Aziza Baịbụl nye Nzọpụta Dabeere Na Ọrụ

# N'EFU N'EZIE!



Zane C. Hodges

**Aziza Baịbụl**

**nye Nzọpụta Dabeere Na Ọrụ**

# N'EFU N'EZIE!

## Zane C. Hodges

N'efu n'Ezie!
Azịza Baịbụl nye Nzọpụta Dabeere Na Ọrụ

Copyright © 2026 site na
Zane Hodges Library

Onye Ntụgharị Asụsụ: Iheanyi Chijioke Njoku
Nhazi Mkpuchi: Debbie Payne

www.ZaneHodges.org

Hodges, Zane C. (1932–2008)

Nkwupụta Akwụkwọ Nsọ niile sitere na
[Bible Nsọ; Baịbụlu Nsọ n'Igbo Ndi Ugbu a].

Nye ndị mụrụ m,

Z. C. na Virginia Hodges,

ndị ghọtara tupu m aghọta

na nzọpụta bụ

n'efu n'ezie!

**Odinaya**

**Okwu mmalite**.........1

**1. Okwu mmalite: Nna na Nwa**.........3

**2. Okwukwe Pụtara Naanị —Okwukwe!**.........8

**3. Ì Kweere Nke A?**.........14

**4. Gịnị Mere n'Ezie?**.........19

**5. nweghị Nloghachi Njem**.........23

**6. Ụbọchị Ndị Anyị Nọ n'Ụlọ Akwụkwọ**.........30

**7. Ịkwụsị Akwụkwọ**.........37

**8. Agha Eze**.........44

**9. Ọta Nke Bú Okwukwe**.........50

**10. Ọ Bụ Gị Ga-Ekpebi**.........57

**11. Iso Jizọs Rie Nri**.........64

**12. Nchegharị**.........72

**13. Ndị A Gụrụ ná Ndị Ezi Omume n'Ihi Ọrụ Ha**.........87

**14. Gịnị Mere I Ji Akpọ M Ezi Mmadụ?**.........94

**15. Onyenwe Anyị Dị Ndụ**.........101

**Rịba Ama**.........109

# Okwu mmalite

Ọtụtụ afọ gara aga, mgbe m dị afọ iri na ụma, agara m nzukọ ozi ọma n'otu obere chọọchị Baptist dị na Hagerstown, Maryland. N'agbanyeghị na azọpụtaala m, nzukọ ndị ahụ nwere mmetụta na-adịgide adịgide n'ahụ́ m dị ka onye kwere ekwe na-eto eto.

Ọ bụghị nanị na e ji okwu ndị dị mfe ma na-adọrọ mmasị kwuo okwu banyere nzọpụta ná nzukọ ndị ahụ, Ma, abụ ahụ e ji mere isiokwu ahụ metụrụ m n'obi nke ukwuu. Okwu abụ ahụ dị mfe, ma eziokwu dị na ha dị omimi. Okwu ndị ahụ bụ:

Ọ bụ n'efu! Ee, ọ bụ
n'efu n'ezie!
N'ihi na Chineke enyewo nzọpụta,
n'efu n'ezie!
Ọ bụ n'efu! Ee, ọ bụ
n'efu n'ezie!
N'ihi na Chineke enyewo nzọpụta Ya dị ukwuu,
n'efu n'ezie!
-A maghị onye dere ya

Iri afọ anọ agafeela kemgbe e mere nzukọ ndị ahụ. Ma ọtụtụ afọ nke ọmụmụ Baịbụl, nke m mere n'onwe m nakwa n'ụlọ

akwụkwọ kọleji Ndị Kraịst ma n'ụlọ akwụkwọ ndị ọkà mmụta okpukpe, emeghị ihe ọ bụla iji belata ịma mma nke abụ ahụ.

Ọ kwụsịbeghịkwa ịbụ ihe na-akpali akpali nye m mgbe ọtụtụ afọ nke ime nkwusa na izi Okwu Chineke gasịrị. N'ezie, enwewo m ihe ùgwù nke ịhụ ike eziokwu a dị mfe na-akpa n'obi na ná ndụ nke ọtụtụ ndị ikom na ndị inyom, ndị na-eto eto na ndị agadi.

N'ezie, onye dere abụ ahụ maara ihe ọ na-ekwu. Okwu ya dabeere kpam kpam na Baịbụl. N'ezie, ihe o mere n'ezie bụ iji abụ mee ka a ghọta isi ihe dị n'Oziọma Ndị Kraịst. O tinyewo n'egwú ọkpụkpọ òkù kachasị mma nke mmadụ nụtụrụla. Ọkpụkpọ òkù ahụ dịkwa nnọọ ka òkù ahụ Jọn onyeozi kpọrọ:

Onye nāchọ, ya nara miri nke ndu ahu n'efù. (Mkpughe 22:17)

Akwụkwọ a bụ banyere onyinye ahụ. Karịsịa, ọ na-asọpụrụ otú amara Chineke nke na-azọpụta si bụrụ n'efu. O siterekwa n'obi onye edemede nke na-enweghị ike ịchọta okwu zuru ókè iji kọwaa onyinye dị ukwuu otú ahụ, mana onye na-efe Onye Nzọpụta ya maka ya.

Na peeji ndị na-esonụ, ihe ọ bụla a ga-ekwu iji mee ka Oziọma a doo anya, ka e kwuru n'ụzọ doro anya dị ka o kwere mee. E kwesịrị ịdị na-ezi ozi dị ebube dị otú ahụ mgbe nile n'ụzọ doro anya na n'atụghị egwu. Ọ dịghị ihe na-erughị nke ahụ ga-eme ka o zie ezi.

Ma ozi ahụ dịkwa oké ọnụ ahịa nke ukwuu. O kwesiri ka anyị nyefee ndụ anyị niile nye Chineke, onye nyere anyị ịhụnanya Ya n'efu. Ma n'ihi na ọ bụ n'efu, ka ọ na-akpali anyị n'ụzọ siri ike ikwesị ntụkwasị obi dị otú ahụ.

N'ihi ya, ana m ewere ya dị ka ihe ùgwù, ịbụ otu n'ime ndị kweere na mgbe mmadụ tụkwasịrị Kraịst obi nanị maka ndụ ebighị ebi, ọ bụ mgbe ahụ ka Chineke na ụmụ mmadụ pụrụ

izute. N'oge ahụ ha zutere, a na-ekpebi ọdịnihu onye ahụ ruo mgbe ebighị ebi, a na-emekwa ka ndụ ebighị ebi dị ebube na-amalite n'ime mmadụ mgbe ha kwenyere. Site n'ọnọdụ nke ọnwụ ime mmụọ anyị na-agafe n'ógbè nke ndụ ime mmụọ, na ohere nile bara ụba nke oké mgbanwe ahụ na-eweta.

Ònye pụrụ ide banyere eziokwu dị otú ahụ n'ụzọ kwesịrị ekwesị? N'agbanyeghị nke ahụ, anyị ga-agbalị ime otú ahụ ruo n'ókè ọ masịrị Chineke ime ka anyị nwee ike ime otú ahụ. Ma o nwere otu ihe anyị maara: “onyinye-amara nke Chineke bu ndu ebighi-ebi nime Kraist Jisus Onye-nwe-ayi.” (Ndị Rom 6:23).

Ma ọ bụ, n'ikwu ya n'ụzọ ọzọ: Amara Chineke nye ndị ikom na ndị inyom na-eme mmehie bụ - ma ugbu a ma mgbe nile – *n’ezie n'efu!*

# Isi Nke 1

## Okwu mmalite: Nna na Nwa

N'otu n'ime ilu Ya ndị a na-apụghị ichefu echefu, Onyenwe anyị Jizọs ji okwu ndị a kọwaa mgbake ime mmụọ nke nwa mmefu ahụ:

> Ma mḅe ọ mara onwe-ya ọ si, Ọ̀tutu ndi egoro ọlu ole nke nnam nwebigara oḅe achicha ókè, ma mu onwem nāla n'iyì n'oké agu n'ebe a! M'gebili jekuru nnam, m'gāsi kwa ya, Nna, emehiewom megide elu-igwe, na n'iru gi: "ekwesighi m ka akpọkwam nwa-gi ọzọ: mem ka m'di ka otù onye nime ndi nke gi egoro ọlu." (Luk 15:17-19)

"Ndụ a abaghị uru". nwa mmefu ahụ nọ na-agwa onwe ya, sị: "Ọbụna ndị nna m na-akwụ ụgwọ na-arụ ọrụ ka mma karịa m! Ya mere, gịnị mere na agaghị m alaghachi, kweta na m mejọrọ, rịọkwa nna m ka o kwe ka m rụọrọ ya ọrụ?"

Site n'amamihe Ya na-adịgide adịgide, Onyenwe anyị ejiriwo nkenke n'ụzọ dabara adaba kọwaa echiche ndị a na-ahụkarị n'obi ndị mmehie a na-azọpụtaghị. Karịsịa, ụdị echiche ndị dị otú ahụ pụrụ iru n'obi ndị dabara n'ime mmehie dị oke njọ. Dị ka nwa mmefu ahụ n'onwe ya, ha na-ekpebi na ndụ ha na-ebi ugbu a abaghị uru ọ bụla.

Ha na-amatakwa na ha chọrọ Chineke. N'ihi ya, ha kpebiri ịlaghachikwute ya. Ma dị ka nwa mmefu ahụ ọzọ, ha anaghị ama ụdị ọnọdụ a ga-eji anabata ha.

N'ezie, ha maara na ha emewo ihe ọjọọ n'ụzọ dị oké njọ. Ha dị njikere ikweta nke ahụ n'ihu Chineke. Ma ha pụkwara iche na ha aghaghị ịrụrụ Ya ọrụ iji nweta ihu ọma Ya.

N'akụkụ a, nwa mmefu ahụ hiere ụzọ. Ihe o chere bụ na ya na nna ya pụrụ ime nkwekọrịta. Na Ọ bụrụ na nna ya ekwe ka ya biri n'ụlọ, ọ ga-arụ ọrụ maka ihe nile ọ ga-enweta.

Ma nke ahụ abụghị echiche nna ya ma ọlị! Kama nke ahụ, ọ na-eji ịnụ ọkụ n'obi echere ka nwa ya nwoke laghachikwute ya. Ọ dịkwa njikere ịnabata ya n'enweghị ihe ọ bụla a ga-emezu.

N'ezie, nnabata nke nna ya juputara n'ihụnanya, bụ nke a ga-enye n'efu!

Akụkọ ahụ gara n'ihu, sị: "O we bilie, biakute nna-ya. Ma mḅe ọ nọ n'ebe di anya uḅu a, nna-ya huru ya, o we nwe ọmiko n'aru-ya, ḅa ọsọ, makua ya n'olu, sutu kwa ya ọnu nke-uku." (Luk 15:20).

O nwebeghị otu okwu si n'ọnụ nwa okorobịa ahụ pụta! Ma nna ya anabatala ya nke ọma, n'etinyeghị ọnọdụ ọ bụla.

Ọ bụ naanị ugbu a ka ọ na-ekwu okwu: "Nwa-ya we si ya, 'Nna, emehiewom megide elu-igwe, na n'iru gi: ekwesighi m ka akpọkwam nwa-gi ọzọ.'" (Luk 15:21).

Obi abụọ adịghị ya na nwa mmefu ahụ nwere obi ụtọ dị ukwuu n'ihi otú e si jiri obiọma nabata ya. N'ụzọ ziri ezi, ọ na-eche na ya erughị nnọọ eru inweta ịhụnanya dị otú ahụ. Ya mere, ọ na-enye ugbu a akụkụ mbụ nke obere okwu ọ haziri.

Ma ọ bụ nanị *akụkụ* nke okwu ahụ ka ọ na-ekwu! Okwu ndị ahụ, "mem ka m'di ka otù onye nime ndi nke gi egoro ọlu." Ọ dịghị mgbe a na-ekwu banyere ha.

Ọ bụghị ihe ijuanya. Nwa ya nwoke ahụ aghọtawala ugbu a na ihe ahụ ọ na-eme atụmatụ ị tụ aro ya adịghị mkpa maka nzukọ dị ka nke a. O doro anya na o nwetalarị mgbaghara na ịhụnanya nna ya. Ikwu okwu ndị dị otú ahụ ugbu a ga-abụ nnọọ okwu mkparị na nke na-ekwesịghị ekwesị.

Ihe ọzọ nna ahụ kwuru gosiri na nke a bụ eziokwu. Nwa nwoke ahụ ka kwupụtara na ya erughị eru, nna ya zaghachikwara nke a site n'inye ndị ohu ya iwu:

> Ma nna-ya siri ndi-orù-ya, Chiputa uwe-nwuda nke kachasi nma ọsọsọ, were ya yikwasi ya; tiye kwa nḅa-aka n'aka-ya, na akpukpọ-ukwu n'ukwu-ya: sekputa kwa nwa-ehi azùru azù, ḅue ya, ka ayi ri kwa, ka obi tọ kwa ayi utọ: n'ihi na nwam nka nwururi anwu, o we di ndu ọzọ; o fururi efu, ewe hu ya. Ha we malite ime ka obi tọ ha utọ. (Luk 15:22-24).

Ọ bụrụ na okwu ahụ bṹ, "Mee m ka m bụrụ otu n'ime ndị na-ejere gị ozi", ka nọ n'egbugbere ọnụ nwa okoro ahụ, Ọ ga-abụrịrị na o jidere onwe ya ozugbo.

Nna ya anaghị eche banyere ihe nwa ya nwoke nwere ike imere ya. Kama, ọ na-eche banyere ihe ọ nwere ike imere nwa ya nwoke ugbu a!

Ọ bụkwa dị ka nwa—ọ bụghị dị ka ohu a na-akwụ ụgwọ—ka nna ya nabatara ya. Ọ bụ naanị uwe mwụda kasị mma ka ọ ga-enwe, tinyere mgbaaka na akpụkpọ ụkwụ. Oriri ahụ sochirinụ abụghị mmemme maka mbata nke ohu ọhụrụ maka ọrụ ugbo nna ya!" Oriri ahụ bụ ememe mgbake nke nwa furu efu. Ọ bụ ememe ịbịa ná ndụ nke onye nwụrụ anwụ na mbụ.

N'ezie, ọṅụ dị otú ahụ na-adị n'eluigwe mgbe ọ bụla onye mmehie, bṹ onye furu efu ma nwụọ ná mmehie ya, chigharịkwuuru Chineke ma nweta ịhụnanya na-enweghị atụ nke Nna anyị nke eluigwe onye amara.

Ma, n'ụzọ dị mwute, ọṅụ nke Onyenwe anyị kọwara n'ụzọ bara ụba na-efunahụ ọtụtụ ndị n'ime chọọchị ndị na-ezisa ozi ọma taa. Kama ịnakwere nnwere onwe nke ịhụnanya Chineke nke na-azọpụta ndụ n'efu, ọtụtụ ndị na-etinye ihe ụfọdụ n'ime ya.

Ọzọkwa, ha na-akwado echiche mbụ nke nwa mmefu ahụ banyere iso nna ya mee nkwekọrịta.

[1] Dị ka ha si kwuo, nna ahụ agaraghị anabata nwa ya ma a sị na nwa ya adịghị njikere ije ozi! A pụghị ikwubiga okwu ókè banyere ihie ụzọ dị mwute nke echiche a.

*Usoro Nzọpụta Dabeere Na Ọrụ*

Ọ ga-esi ike iche n'echiche mkparịta ụka dị ka nke a n'etiti nna na nwa ya nwoke:

Nwa: "Nna m ộ bụ *eziokwu* na m bụ nwa gị, ka a gbatara m n'ohu"

Nna: "Ọ dị mma, nwa okorobịa, ọ dabere n'otú i si akpa àgwà. Ọ bụrụ na ị bụ nwa m n'ezie, ị ga-egosipụta nke a site n'ime ihe ndị m gwara gị mee. Ọ bụrụ na ị nwere ọdịdị m n'ime gị, ọ bụ nnọọ ihe dị otú o kwesịrị ka ị na-erube isi"

Nwa: "Ma, Nna m, ọ bụrụkwanụ na m na-enupụrụ gị isi ọtụtụ mgbe?"

Nna: "mgbe ahụ, Ị nwere ihe mere ị ga-eji nwee obi abụọ na ị bụ nwa m nwoke"

Olee ụdị nna ga-agwa nwa ya okwu otú ahụ? Ộ bụ na e kwesịghị ikwu na obi tara nna ahụ mmiri n'ihi na ọ mere ka nwa ya na-echegbu onwe ya? N'oge dị ka nke a, ộ bụ na mkpa kasịnụ nke nwa ya abụghị mmetụta nke ịbụ onye a nabatara na onye a hụrụ n'anya?

Ma igbochi nnabata a, iji hụ na nwa ya nwoke na-erubere ya isi, bụ ịzụ ahịa nkàtộ na egwu.

Ma, n'ụzọ dị ịtụnanya, nke a bụ ụdị nkwurịta ụka ụfọdụ ndị nkụzi bụ́ Ndị Kraịst yiri ka hà na-eche na o kwesịrị ekwesị n'etiti Chineke na mmadụ. Dị ka ha si kwuo, ọ bụrụ na mmadụ na-eche ma ọ̀ bụ Onye Kraịst ka ọ̀ bụ na ọ bụghị, e kwesịrị ịgwa ya ka o lee omume ya anya iji chọpụta ma ọ̀ bụ Onye Kraịst.[2]

Ndị nkụzi a na-ekwusi ike na ọ dị ize ndụ ikwe ka mmadụ jide n'aka na ọ bụ onye Chineke nabatara ma ọ bụrụ na ọ bụghị onye na-erube isi. Nye ha, ọ dịghị ihe dị ka ịhụ Chineke n'anya n'ụzọ na-enweghị atụ nke na-adabereghị, n'ụzọ ụfọdụ, n'otú mmadụ si akpa àgwà.

Nke a bụ ọdachi nke chọọchị ndị na-ezisa ozi ọma taa. O siworo n'ezi ịhụnanya nke Chineke, bụ́ nke na-adịghị etinye ọnọdụ ọ bụla n'ebe mmadụ nọ, pụọ n'ụzọ dị egwu. Ruo n'ókè dị ịtụnanya, Ọ ghọwo onye kpuru ìsì nye obi ịhụnanya nke Nna nke ji ndidi na-echere, dị ka nna nke nwa mmefu ahụ, ịnabata ndị mmehie n'ụzọ zuru ezu site n'ịnakwere ha na site ná mgbaghara Ya dị ukwuu.

Ọ bụrụgodị na onye mmehie chegharịrị echegharị echee na ya kwesịrị ikwe Chineke nkwa na ya ga-eji ndụ ya niile jeere ya ozi, Nna ahụ agaghị ekwe ka nkwa dị otú ahụ bụrụ akụkụ nke nnabata amara Ya nke onye mmehie ahu.

Ma ọtụtụ ndị na-ekwusa ozi ọma taa echezọwo eziokwu a. N'ezie, ha na-agọnahụ ya. Ihe kasị pụta ìhè si na ya pụta bụ mgbasa nke ihe a na-akpọkarị "Usoro nzọpụta dabeere na ọrụ". *Nke a bụ echiche bụ́ na nkwa nke nrubeisi aghaghị ịbụ akụkụ nke ezi nchigharị ime mmụọ.*[3] Ma n'okpuru elu ahụ, e nwere mkpụrụ ọjọọ nile nke ụzọ iche echiche a na-eweta ọdachi.

Naanị ebighị ebi ka ga-ekpughe ọtụtụ puku mmadụ a napụrụ obi ike ha site na ozizi a ma ewebata ha n'agbụ nke egwu na mmekọrịta ha na Chineke.

Kama ịkwalite ịdị nsọ, ozizi nke nzọpụta dabeere na ọrụ na-ebibi ntọala ahụ e ji ewu ịdị nsọ nke eziokwu. Site na ịlaghachi n'ụkpụrụ iwu, ọ tụfuru ike ime mmụọ nke amara.

### *Mmụọ Ikpe Ikpe*

Dị ka a ga-asị na ihe ndị ahụ a kpọtụrụ aha banyere ha ezughị, Usoro nzọpụta dabeere na ọrụ na-akwalite mmụọ ikpe ikpe na nke ime ka ndị Farisii n'ime chọọchị. Lee ka ọ si dị obi anyị na-emehie emehie mfe iche na anyị nwere ikike ịgwa onye kwere ekwe na-ada ada, "Ị dịghị nnọọ mma maka ịga eluigwe"!

N'ezie, a dịghị ekwukarị okwu a n'ụzọ doro anya otú a. Ma n'agbanyeghị otú e si jiri nlezianya kpuchie okwu ahụ n'okwu okpukpe, ma ọ bụ jiri nkà mmụta okpukpe dị mgbagwoju anya kpuchie ya, eziokwu ahụ dị mwute bụ otu ihe ahụ. Ozizi nzọpụta dabeere na ọrụ na-enye onwe ya ikike nke ịnapụ ndị Kraịst na-ekwupụta na ha bụ ndị Kraịst ihe ha na-azọrọ na ha bụ n'okwukwe na ịtụ ndị dị otu ahụ mkpọrọ nke ịbụ ndị furu efu.

N'ezie, e nwere ọtụtụ ihe mere a ga-eji chee na e nwere ìgwè mmadụ nọ na chọọchị taa bụ́ ndị a na-azọpụtabeghị n'ezie. Ma nke a bụ n'ihi na ha aghọtaghị onyinye nke ozioma, ma ọ bụ ịnakwere ya.[4] Eziokwu ahụ bụ na mmadụ ịda n'okpuru ụkpụrụ omume ọma ndị e depụtara n'okwu Chineke bụ ihe dị mwute ma na-akpasu iwe mgbe nile. Ma ọ bụchaghị ihe àmà na-egosi na a zọpụtabeghị mmadụ. È nwere Onye Kraịst ọ bụla na-enweghị ebe ndị ọ na-emejọ nke ọ na-aghaghị ịchọ amara Chineke iji merie?

Ma echiche usoro nzọpụta dabeere na ọrụ adịghị enwe afọ ojuju, ọ na anọgide na-ekwu na nchegharị ụfọdụ ezighi ezi. Ihe fọrọ nke nta ka ọ bụrụ mmadụ nile ga-ekweta na nke ahụ bụ eziokwu. Kama nke ahụ, ozizi nzọpụta nke dabeere na ọrụ na-aga ọbụna n'ihu n'ịghara ikwe ka mmadụ kwuo na ya nwere ntụkwasị obi n'ebe Kraịst nọ n'ihi na ndụ ya erughị eru nke na nkwupụta ahụ apụghị ịbụ eziokwu.

Ma ọ na-efu ọtụtụ ihe inwe ikike ime ụdị mkpebi a. Ihe ọ na-efu bụ nnọọ idegharị ozi ọma ahụ Onyenwe anyị na ndịozi ya kwusara. Nke a na-eduga n'ịgbanwe echiche nke “okwukwe na-azọpụta” N’ihi ya, ihe a na-ewere dị ka okwukwe n'echiche nke Usoro nzọpụta dabeere na ọrụ abụghịzi àgwà Baịbụl nke a na-akpọ otu ihe ahụ.

A pụrụ ọbụna ikwu na nzọpụta dabeere na ọrụ na-ekpuchi ihe nile e kpughere n'Agba Ọhụrụ. N'ime usoro a, eziokwu ahụ dị ebube nke izi ezi site n'okwukwe, ewezuga ọrụ, na-amalite ịla n'iyi, dị nnọọ ka ọ dị n'oge ndị gbara ọchịchịrị tupu Ndozigharị ahụ”. Ihe nọchiri ozizi a bụ ụdị njikọ nke okwukwe na ọrụ ndị na-adịtụ iche na nkuzi Katọlik nke Rom.[5]

*Mmechi*

O doro anya na a pụghị ileghara njehie dị otú ahụ anya dị ka nke na-adịghị emetụta ndụ chọọchị.

Anyị ekwesịghịkwa ileghara ya anya ma chee na ọ ga-akwụsị n'onwe ya. Kama nke ahụ, ndị nile hụrụ ozi ọma nke amara Chineke nke na-azọpụta ndụ n'anya aghaghị ịnakwere ya ma zaghachi ya. Ime ihe na-erughị nke ahụ ga-abụ imechu Onyenwe anyị ihu, na imechu ndị ya ihu, na, n'ezie, imechu ụwa ihu bụ́ nke ọ nwụrụ n'ihi ya.

N'ihi na ọ bụrụ na chọọchị n'onwe ya apụghị ikpebi ọdịdị nke ozi a kpọrọ ya ịkwusaa, olee otú a pụrụ isi mee ka ndị ikom na ndị inyom furu efu soro ịhụnanya Chineke nke na-agbapụta ndụ? N'ihi na asi kwa na opì nāda nke anāmaghi isi-ya, ònye gākwadebe onwe-ya ije agha? (1 Kọr 14:8).

N'ezie, ọ bụ eziokwu na e nwere ihe na-adịghị mma n'arụmụka okpukpe. Onye edemede a enweghị mmasị na ya ma ọlị. Otú o sina dị, e kwesịrị iburu n'uche na ihe mere e ji nwee ọtụtụ akwụkwọ ndị dị n'Agba Ọhụrụ bụ n'ihi na e nwere ihe ndị na-edoghị ha anya ma ọ bụ ihe mgbagwoju anya nke ozizi.

Akwụkwọ ozi Pọl degaara ndị Galeshia nke na-ekpo ọkụ na-abata m n'uche ngwa ngwa. Ma mmadụ pụkwara icheta Ndị Kọlọsi, 2 Ndị Tesalonaịka, 1 Timoti, 2 Pita, 1 na 2 Jọn, na Jud. A sị na ọ bụghị ihe isi ike ndị kpatara ha, anyị agaraghị enwe akwụkwọ ozi ndị a dị oké ọnụ ahịa.

Ya mere Chineke maara otú e si eji arụmụka eme ihe iji kwalite ọdịmma nke Ya na iji mee ka eziokwu nke Ya pụta ìhè.

Otu Chineke ahụ nke nyere iwu ka ìhè na-enwu n'ụbọchị mbụ nke Okike gara n'ihu kewaa ìhè ahụ na ọchịchịrị gbara ya gburugburu. N'ikpeazụ, Ọ nyere ha abụọ aha ha kwesịrị ekwesị, n'ihi na “Chineke we kpọ ìhè ahu Ehihie, ọchichiri ahu ka Ọ kpọkwara Abali.” (Jen 1:3-5).

Chineke na-emekwa nke a mgbe nile site n'ìhè nke eziokwu Ya. Nke mbụ Ọ na-ekpughe ya - Ọ na-enye ya iwu ka ọ na-enwu. Ma ọ na-ekewapụkwa ìhè a site na ọchịchịrị na-abịaru nso gburugburu ya, na-akpọ nke ọ bụla site n'ezi aha ya. N'ógbè okpukpe, Ọ na-akpọ aha ha eziokwu na njehie!

Ya mere, nke a bụ akụkụ dị mma nke esemokwu okpukpe. Ọ bụ ngwá ọrụ dị n'aka Chineke dị ndụ iji mee ka eziokwu Ya pụta ìhè nke ọma. N'agbanyeghị na ọ dịghị mma, n'onwe ya, arụmụka na-eme ka eziokwu Chineke pụta ìhè n'ụzọ doro anya site n'ihe ndị na-ezighị ezi bụ́ ndị ga-agbagọ ma zochie ya.

A ga-enwe olileanya na, site n'amara Chineke, arụmụka banyere nzọpụta dabeere na ọrụ ga-emezu ebumnobi ndị a n'oge anyị. Ọ bụrụkwa na nke ahụ emee, ndị nke Chineke ga-enwe ihe mere ha ga-eji nwee ọṅụ n’ezie.

E kwuwerị, gịnị pụrụ ịbara chọọchị uru karịa ịbụ ndị e mere ka ha mara ọzọ banyere ịdị mfe dị ebube nke amara nzọpụta Chineke? Oleekwa ihe pụrụ ịka mma maka ụwa nke a kpọrọ anyị ịkwusaa amara a?

N'ihi na ọ bụrụ na *anyị ghọtara* ya nke ọma, anyị nwere ike *ikwu* ya nke ọma!

# Isi Nke 2

# Okwukwe Pụtara Naanị —Okwukwe!

Ọ ga-esi ike ịchọta okwu dị n'ime Baịbụl nke dị nnọọ mfe nghọta karịa okwu Onyenwe anyị Jizọs Kraịst mgbe o kwuru, sị:

> N'ezie, n'ezie, asim unu, Onye nēkwere nēnwe ndu ebighi-ebi. (Jọn 6:47)

N'ezie, nkwupụta a dị nnọọ mfe nghọta nke na ọbụna ụmụaka na-eto eto pụrụ ịghọta ya. N'ezie, ọtụtụ mmadụ nwere ike ịghọta nke a ngwa ngwa. Ịdị n'eziokwu na nghọta ya dị ebube.

N'ezie, ọ bụ okwu ndị dị ka nke a na-egosi otú Chineke si chọsie ike ime ka a mara ihe O kwere ná nkwa banyere nzọpụta. Ọ bụ ezie na enwere isiokwu ndị dị na Bible nke siri ike nghọta. Pita n'onwe ya kwuru otú ahụ (2 Pita 3:16) Ụzọ nke nzọpụta abụghị otu n'ime ha.

N'ezie, ọtụtụ ndị ikom na ndị inyom, ndị na-eto eto na ndị agadi, bụ́ ndị si n'ọnọdụ nile nke ndụ, achọtawo Kraịst site n'amaokwu ndị dị nnọọ mfe dị ka nke a.

Ma ọ bụ ezie na onye toro eto, na ọbụna nwatakịrị, pụrụ ịghọta Jọn 6:47, ụfọdụ ndị nkụzi na ndị ọkà mmụta okpukpe bụ́ Ndị Kraịst adịghị aghọta ya!

N'ihe ga-abụrịrị otu n'ime ngbagọ Baịbụl Jọrọ njọ nke ukwuu n'oge anyị, ndị kwenyere na nzọpụta dabeere na ọrụ na-agbanwe ihe okwu Onyenwe anyị pụtara ebe ọ dị nwute. Site n'ịbụ ihe nlereanya nke ịdị mfe, a na-eme ka okwu Onye Nzọpụta bụrụ ihe a na-apụghị ịghọta aghọta.

Ihe o *bu* n'uche n'okwu ndị a - ka a gwara anyị - bụ ihe dị ka nke a:

> N'ezie, n'ezie, asị m unu, onye ọ bụla nke *chegharịrị*, *kwere*, *ma na-erube isi n'ihe niile m na-ekwu n'enweghị ajụjụ*, nwere ndụ ebighị ebi.

N'ịkwado mgbanwe a doro anya e mere n'ihe odide ahụ, e mesiri anyị obi ike na echiche ndị ọzọ nile dị n'okwu ahụ bụ́ "kwere." Ọ bụrụ na anyị ghọtara echiche Baịbụl banyere "okwukwe na-azọpụta",Dị ka e si kwuo, mgbe ahụ anyị ga-ahụ izi ezi nke ụzọ a e si aghọta okwu Jisọs.[1]

Nke a bụ nnọọ ihe a na-atụghị anya ya! Ònye gaara echetụ ya n'echiche? A sị na ọ bụghị maka ozizi nke okwukwe na-azọpụta nke nkà mmụta okpukpe nke usoro nzọpụta dabeere na ọrụ na-akwalite, olee onye na-agụ akwụkwọ nke gaara aghọta Onyenwe anyị n'ụzọ dị otú a? N'ezie, ya onwe ya nwere ike ịchọọ akwụkwọ oziọma Jọn dum ugboro ugboro ma ọ dịghị mgbe ọ ga-ahụ otu ntụaka banyere nchegharị, ma ya fọdụzie ebe e zoro aka n'inyefe onwe onye ma ọ bụ ido onwe onye n'okpuru dị ka ihe a chọrọ iji nweta ndụ ebighị ebi. Ma, n'ezie, ha ga-ahụ okwu ahụ bụ́ "kwere" ọtụtụ, ugboro!

Nyocha ndị a egosila na ha anaghị akwado echiche nke nzọpụta dabere na ọrụ. Eziokwu bụ na Oziọma Jọn bụ *naanị akwụkwọ dị n'Agba Ọhụrụ* nke na-ekwupụta n'ụzọ doro anya na e dere ya n'ebumnuche nke ikwusa ozi ọma. N'ihi ya, na Jọn 20:30-31, onye dere Oziọma ahụ n'ike mmụọ nsọ na-ekwu, sị:

> Ya mere ọtutu ihe-iriba-ama ọzọ ka Jisus mere n'iru ndi nēso uzọ-Ya, nke anēdeghi n'akwukwọ a: ma edewo ihe ndia n'akwukwọ, ka unu we kwere na Jisus bu Kraist ahu, Ọkpara Chineke; ka unu we nwe kwa ndu n'aha-Ya n'ihi na unu kwere.

Ma, n'agbanyeghị ebumnuche a e kwupụtara n'ụzọ doro anya iji mee ka ndị mmadụ nwee okwukwe nzọpụta, Oziọma Jọn na-ewepụ onwe ya n'ebe dị anya n'ikowa nzọpụta dabere na ọrụ, dị ka ehihie si dị anya n'abalị!

Ọ dị ihe mebiri emebi n'ụwa nke ndị na-ezisa ozi ọma mgbe a na-anabata ozizi nke na-emegide nnọọ ihe onye nkwusa ozioma nke anọ kwuru ugboro ugboro. Gịnị bụ nsogbu dị ebe a? Ebee ka mgbọrọgwụ nke mgbagwoju anya a dị?

*Gịnị Bụ Okwukwe Na-azọpụta?*

Ikekwe azịza kasị mkpa nye ajụjụ ndị dị otú ahụ bụ ikwu na akụkụ buru ibu nke chọọchị ndị Kraịst ejiriwo nwayọọ nabata usoro nke tụgharịrị ihe okwukwe pụtara ihu n'ala.

N'ime ọtụtụ afọ, e nwewo echiche na-ewu ewu na ezi okwukwe nke na-azọpụta ndụ dị iche n'okwukwe ụgha, karịsịa site n'ihe ndị ọ na-arụpụta ma ọ bụ "mkpụrụ."[2]

Ya mere, mmadụ abụọ nwere ike ikwere otu ihe, ma ọ bụrụ na otu n'ime ha gosipụtara ihe yiri ka ọ bụ ahụmahụ "na-adịghị amị mkpụrụ" nke Ndị Kraịst, a ga-akatọ okwukwe ya dị ka "nkwenye ọgụgụ isi," ma ọ bụ "nkwenye isi" megide "nkwenye obi." N'ikwu ya n'ụzọ dị mkpirikpi, okwukwe ya bụ okwukwe ụgha - Ọ bụ okwukwe nke na-adịghị azọpụta, na nke n'enweghị ike ịzọpụta.

Site n'echiche ndị dị ka ndị a, a kwadebere ala maka nkà mmụta okpukpe nke nzọpụta dabeere na ọrụ. Ọ fọdụrụ n'aka ndị usoro nzọpụta dabeere na ọrụ ime ka okwu a gaa n'ihu.

Ha kwenyesiri ike na ihe na-efu n'ezie na okwukwe ụgha, bụ ihe ndị na-egosi ezi nchegharị na ido onwe onye n'okpuru Chineke. N'ihi ya, e kwesịghị ịkọwa okwukwe na-azọpụta nanị n'ihe banyere ịtụkwasị obi, kamakwa n'ihe banyere itinye uche Chineke n'ọrụ. N'ihi enweghị ụdị nrubeisi a, ha siri ọnwụ, na mmadụ apụghị ịkọwa okwukwe ya dị ka okwukwe nzọpụta dabeere na Baịbụl.

Ọ bụrụ na e nwere echiche ọ bụla na-eweta nkwenkwe ndị dị ize ndụ n'ime nkà mmụta okpukpe, ụzọ iche echiche a bụ ya.

N'okpuru nkọwa a na-apụghị iguzogide eguzogide nke okwukwe na-azọpụta, ozizi nke nzọpụta dabeere na ọrụ na-ewebata n'ime chọọchị ndị Kraịst ozizi nke nzọpụta nke ndị dere Agba Ọhụrụ na-amaghị. Ọ na-eme ka onyinye nke ndụ ebighị ebi a na-enye n'efu ghọọ "nkwekọrịta" dị n'etiti onye mmehie na Chineke, ọ na-emekwa ka ọṅụ nke ibi ndụ dị ka Onye Kraịst ghọọ mgbalị siri ike iji nyochaa okwukwe anyị na nnabata anyị n'ihu Chineke. Dị ka nkà mmụta okpukpe, ọ bụ ọdachi zuru ezu.

Ma ọ bụkwa ihe na-enweghị isi. Obere ntụgharị uche ga-egosi nke a.

N'akụkụ ọ bụla ọzọ nke ndụ, ma e wezụga okpukpe, anyị adịghị agbagwoju onwe anyị anya site n'ajụjụ ndị na-enyocha onwe anyị banyere "ọdịdị" nke okwukwe anyị. Dị ka ihe atụ, ọ bụrụ na m jụọ mmadụ, sị, "Ì kweere na Onyeisi ala ga-eme ihe o kwere ná nkwa?" Enwere m ike ịtụ anya otu n'ime azịza atọ ndị a. Otu azịza pụrụ ịbụ, "Ee, ekwere m. Azịza ọzọ nwere ike ịbụ, "Mba, ekwenyeghị m." Ma onye na-aza ajụjụ m nwekwara ike ịza, sị, "Ejighị m n'aka," ma ọ bụ, "Amaghị m."

Ọ dịghị ihe dị mgbagwoju anya banyere mkparịta ụka a. Abụọ n'ime azịza atọ ahụ na-ekpughe enweghị ntụkwasị obi na Onye isi ala. Azịza ya, "Mba, ekwenyeghị m, na-egosi enweghị ntụkwasị obi ziri ezi ebe onye isi ala nọ. Nzaghachi,"Ejighị m n'aka," na-egosi ejighị n'aka banyere iguzosi ike n'ezi ihe nke Onyeisi Ala. Nanị azịza bụ́, "Ee, ekwere m," na-egosi okwukwe ma ọ bụ ntụkwasị obi.

N'ezie, onye na-aza ajụjụ m nwere ike ịgha ụgha mgbe ọ sịrị, "Ee, ekwere m." Enwere m ike ịma ya nke ọma nke na m ga-asị, "Ị ji m na-egwu egwu, ọ́ bụghị ya?" Ị tụkwasịghị Onyeisiala obi ma ọlị, ka ị̀ tụkwasịrị ya?

O doro anya na agaghị m asị, "Kedu ụdị okwukwe ị nwere n'ebe Onyeisiala nọ? Ị̀ ga-agazi mebie iwu? Ọ bụrụ na i mee otú ahụ, ò bụ na ọ gaghị ebuli ajụjụ banyere ma ị tụkwasịrị ya obi n'eziokwu?"

Ajụjụ dị otú ahụ ga-abụ ihe nzuzu. Onye na-aza ajụjụ m ga-enwe ihe mere ọ ga-eji chee na m na-egwu egwu. Ọ bụrụkwa na o jiri m kpọrọ ihe, ọ ga-enwe ikike zuru oke ịzaghachi, "Gịnị ka imebi iwu m nwere na nkwenye siri ike m nwere na m nwere ike ịtụkwasị Onye isi ala obi n'ihe ọ bụla ọ na-ekwu?"

N'ụzọ doro anya, anyị nile na-eme ihe n'ụzọ ezi uche dị na ya mgbe anyị na-ekwu banyere okwukwe ka ọ na-emetụta ndụ anyị na-adị kwa ụbọchị. Ọ bụ nanị mgbe anyị na-atụle isiokwu a n'okpukpe ka anyị na-echefukarị ezi uche anyị n'ọnụ ụzọ.[3]

N'ezie, ná ndụ mmadụ, echiche nke "okwukwe ụgha" ga-ebilite nanị mgbe ụfọdụ. Gịnị ka okwu dị otú ahụ ga-apụta mgbe a na-ekwu okwu? Ọ̀ bụ na o kwesịghị ịpụta ihe dị ka "okwukwe hiere ụzọ" ma ọ bụ "okwukwe ụgha"? Onye nwere okwukwe dị otú ahụ pụrụ ihie ụzọ n'ikwere ihe ha na-eme. Nkwenkwe ya n'ezie pụrụ ịbụ ụgha. Ma ọ bụ na ha pụrụ nanị ịdị na-eme ka hà nwere nkwenye, ma ọ bụ obi ike, bụ́ nke ha na-enweghị n'ezie.

Ma "okwukwe ụgha" apụghị izo aka n'ezi nkwenye ma ọ bụ ntụkwasị obi nke na-erughị n'ụzọ ụfọdụ ụkpụrụ e chepụtara echepụta bụ́ nke e ji atụ ihe ọ rụpụtara!

Ka e kwupụta n'ụzọ doro anya ebe a na okwu Bekee ndị dị ka "ikwere," ma ọ bụ "okwukwe" na-arụ ọrụ nke ọma dịka ezigbo ihe na-anọchi anya okwu ndị yiri ya na Grik. E nweghị ihe ọ bụla e zoro ezo n'okwu Grik ndị a nke nsụgharị Bekee ha na-ejikarị eme ihe na-apụtaghị. Ọ bụ ezie na ụfọdụ ndị ekwuwo na e nwere, nkwupụta a na-egosi echiche na-ezughị ezu ma ọ bụ nke hiere ụzọ banyere nkà mmụta asụsụ nke Baịbụl.[4]

Nke a na-egosi na onye Grik na-agụ okwu ndị a "onye kwere na m nwere ndụ ebighi ebi", ga-aghọta okwu ahụ "kwere" dịka anyị si aghọta ya. O doro anya na onye na-agụ ya *n'ezie* agaghị aghọta okwu a dịka nke pụtara ido onwe onye n'okpuru, inyefe onwe onye, icheghari, ma ọ bụ ihe ọ bụla ọzọ yiri nke ahụ. Nye ndị ahụ na-agụ, dị ka anyị, "ikwere" pụtara "ikwere".

O doro anya na ọ bụ otu n'ime echiche nke nkà mmụta okpukpe nke oge a iche na anyị nwere ike ịkọwa okwu ndị dị mfe dị ka "nkwenye" na "ekweghị ekwe" ma jiri nkọwa ndị dị mgbagwoju anya dochie ihe ha pụtara. Mgbagwoju anya nke ụdị usoro a na-akpata nwere mmetụta zuru ebe nile na chọọchị taa.

Azịza ya dị n'ịlaghachi n'echiche doro anya nke ihe odide Baịbụl.

*Nkwenye nke uche*

N'etiti okwu nzuzo ndị a na-ahụkarị na nkuzi nke nzọpụta dabeere na ọrụ bụ ndị a na-ahụ n'okwu ndị dị ka "amara dị ọnụ ala," "nkwenye dị mfe," na "nkwenye nke uche." A na-ejikarị nkebi ahịrịokwu atọ a eme ihe iji kparịa echiche ahụ bụ́ na a pụrụ inweta ndụ ebighị ebi site n'ịtụkwasị Kraịst obi n'ụzọ dị mfe. Ha atọ na-egosipụta echiche gbagọrọ agbagọ n'ụzọ dị ukwuu banyere ihe ndị a na-ekwu banyere ha.

Dị ka o kwesịrị ịdị, a pụghị ịkọwa amara nzọpụta nke Chineke dị ka "ihe di ọnụ ala" n'echiche na-adịghị mma nke okwu a na-enwekarị. Nke bụ eziokwu bụ na Chineke kwụrụ nnukwu ụgwọ - ọnwụ nke Ọkpara Ya - iji mee ka amara Ya dịrị anyị. Nanị n'ihi na a na-enyere

anyị onyinye amara n'efu adịghị eme ka amara ahụ ghọọ ihe "dị ọnụ ala" ma ọ bụ nke na-abaghị uru.

Ebe ọ bụ na Baịbụl n'onwe ya na-ekwu , "onye nāchọ, ya nara miri nke ndu ahu n'efù." (Mkpu 22:17), o doro anya na anyị adịghị ekwu banyere ihe "dị ọnụ ala" ọbụna n'echiche ziri ezi nke okwu ahụ. Kama nke ahụ, anyị na-ekwu banyere ihe dị nnọọ n'efu!

O doro anya na ọ bụ otu n'ime echiche nke nkà mmụta okpukpe nke oge a iche na anyị nwere ike ịkọwa okwu ndị dị mfe dị ka "okwukwe" na "ekweghị ekwe" ma jiri nkọwa ndị dị mgbagwoju anya dochie ihe ha pụtara. Mgbagwoju anya nke ụdị usoro a na-akpata nwere mmetụta zuru ebe nile na chọọchị taa.

Ebe ọ bụ na Baịbụl n'onwe ya na-ekwu , "onye nāchọ, ya nara miri nke ndu ahu n'efù" (Mkpu 22:17), o doro anya na anyị adịghị ekwu banyere ihe "dị ọnụ ala" ọbụna n'echiche ziri ezi nke okwu ahụ. Kama nke ahụ, anyị na-ekwu banyere ihe dị nnọọ n'efu!

Okwu ahụ bụ́ "nkwenkwe dị mfe" bụkwa nke a na-adịghị anabata. O yikarịrị ka akụkụ ya nke ọzọ ga-abụ "nkwenye siri ike." Ma ọ bụrụ na usoro echiche ọ bụla na-akụzi "nkwenye siri ike", usoro nzọpụta dabeere na ọrụ na-eme ya n'ezie.

Dị ka anyị hụworo, echiche nke nzọpụta dabeere na ọrụ na-agbanwe ihe okwu ahụ bu "kwere" pụtara ma jiri mgbagwoju anya na-ezighị ezi mejupụta echiche nke okwukwe na-azọpụta. Nke a na-eme ka usoro nzọpụta dịkwuo mgbagwoju anya karịa ka ọ dị n'ezie. Ma nzọpụta dị mfe n'ezie, n'echiche ahụ kwa, ọ dị mfe. A sị ka e kwuwe, ọ̀ dị ihe nwere ike ịdị mfe karịa "ịnata mmiri nke ndụ ahụ n'efu."

Ma nke kasị eduhie eduhie n'ime okwu nzuzo nile nke nzọpụta dabeere na ọrụ bụ nkebi ahịrịokwu ahụ bụ́ "Nkwenye nke uche (ma ọ bụ uche)."

N'ozuzu, ihe nkebi ahịrịokwu a na-egosi bụ ụdị okwukwe nke na-enweghị mmetụta ma ọ bụ njikere ime ihe. Okwu ndị dị ka "ọgụgụ isi" ma ọ bụ "uche" bụ ndị bụ isi kpatara nke a.

Ọ bụrụ na m asị, "Nwoke ahụ nwere naanị mmasị ọgụgụ isi na ndọrọ ndọrọ ọchịchị," Ekwuru m na mmasị ya dị anya ma bụrụ nke mmụta naanị. A na-enwe otu mmetụta ahụ n'asụsụ Bekee mgbe m kwuru, "Ọ na-enye naanị nkwupụta ahụ nkwenye uche ya". Ọzọkwa, ana m atụ aro enweghị mmetụta na mmasị.

Ma ka e were ya na m sịrị, "M kwuru ihe dị mkpa, ya ekweta." Mgbe ahụ mmetụta ya ga-adị iche. Site n'okwu ndị a, m na-egosi na m kwenyere n'ihe m kwuru. Ọ dịghịkwa ihe ọ bụla na-adịghị mma dị na ya.

N'ụzọ doro anya, okwu ndị bụ́ "ọgụgụ isi" na "uche" na-akpata nsogbu ahụ. N'ezie, "ọgụgụ isi" apụghị ịpụta ihe ọ bụla karịa "nke ma ọ bụ metụtara ọgụgụ isi," Ọ dịghịkwa mkpa na ọ ga-adị ka ọ̀ bụ ihe ọjọọ ma ọ bụ ihe na-adịghị mma. Ma, nke bụ́ eziokwu bụ na n'ọtụtụ ihe ndị a na-eji ya eme kwa ụbọchị, ọ na-eme ka a ghọta ihe ndị a. N'ihi ya, okwu ahụ bụ́ "Nkwenye nke uche" enweworị mmetụta na-ezighị ezi n'ebe ọtụtụ ndị na-asụ Bekee nọ. Ahịrịokwu ahụ na-ada nnọọ ka ihe na-adịghị mma.

N'ọnọdụ a, anyị kwesịrị ịtụfu okwu ndị dị ka uche ma ọ bụ ọgụgụ isi kpamkpam. Baịbụl amaghị ihe ọ bụla banyere okwukwe nke dabeere n'echiche dị ka e si jiri ya tụnyere ụdị okwukwe ọzọ (dị ka nke mmetụta uche ma ọ bụ nke mmadụ ji aka ya kpebie).[5] Ihe Baịbụl na-aghọta bụ ọdịiche doro anya dị n'etiti okwukwe na ekweghị ekwe!

Ọ dịghị onye ọ dị mkpa ịbụ ọkà n'akparamàgwà mmadụ iji ghọta ihe okwukwe bụ. Anyị ekwesịghịkwa iji "akparamàgwà ndị na-ewu ewu" kọwaa ya. Ọ bụ igbu oge na-adịghị arụpụta ihe iji ụdị ndị a na-ewu ewu - ọgụgụ isi, mmetụta uche, ma ọ bụ uche - dị ka ụzọ isi nyochaa usoro nke okwukwe.[6] Baịbụl anaghị akụzi ụdị ihe a. Ndị mmadụ maara ma hà kweere ihe ma ọ bụ na ha ekweghị, nke ahụ bụ ihe kacha Chineke mkpa.

Ma nzọpụta dabeere na ọrụ na-eduba ndị na-eso ụzọ ya n'ebe mgbagwoju anya nke uche. A na-agwa anyị na ezi okwukwe nwere ihe ndị dị mkpa na mmetụta uche. Ma anyị nwere ike ịjụ, sị: N'echiche dị aṅaa?

Ọ̀ bụ na ọ dịbeghị mgbe ihe ndị mere eme manyere anyị ikwere ihe anyị na-achọghị ikwere? Ọ̀ bụ na anyị ekweghị n'agbanyeghị na anyị achọghị ime otú ahụ? Ọ̀ bụ na nke ahụ abụghị ihe mere Sọl onye Tasọs n'ụzọ Damaskọs? Ọ̀ bụ na ọ bụghịkwa eziokwu na anyị na-ekwenyekarị n'ihe n'enweghị mmetụta uche ọ bụla pụtara ìhè n'ebe ha dị, ebe mmetụta uche na-achịkwa anyị mgbe ụfọdụ?

Ajụjụ ndị dị otú ahụ na-egosi otú echiche ndị a na-ewu ewu banyere okwukwe si bụrụ ndị na-adịghị mma na ndị na-emegiderịta onwe ha.

Otú ọ dị, otu ihe anyị na-apụghị ime bụ ikwere ihe anyị na-amaghị. Ọ bụ ya mere Pọl onyeozi ji kwuo hoo haa, sị, "ma hà gēsi aṅa kwere n'Onye ahu ha akānughi okwu-Ya? (Rom 10:14). O wee gbakwụnye n'ụzọ kwesịrị ekwesị, sị, "Ya mere, okwukwe si n'ọnunu puta, ma ọnunu ahu sitere n'okwu Kraist" (Ndị Rom 10:17).

Nke ahụ ọ̀ na-agụnye ọgụgụ isi? N'ezie! Ma ọ bụ naanị nkwenye ọgụgụ isi? O dighi otú ahụ! Ịkọwa okwukwe n'ụzọ dị otú ahụ bụ ime ka o yie ihe na-abaghị uru, ihe a na-amụ n'ụlọ akwụkwọ, mgbe n'ezie ọ bụghị ihe dị otú ahụ.

N'asụsụ Baịbụl, ihe okwukwe bụ n'ezie bụ ịnata àmà Chineke. Ọ bụ nkwenye siri ike anyị nwere na ihe Chineke na-agwa anyị n'ozi ọma bụ eziokwu. Nke ahụ, na nke ahụ nanị, bụ okwukwe na-azọpụta.[7] Ọ bụ kpọmkwem echiche a banyere okwukwe na-azọpụta nke mere ka okwu Jọn onyeozi doo anya mgbe o dere, sị:

> Ọ buru na ayi anata àmà nke madu, àmà nke Chineke ka ya uku: n'ihi na àmà nke Chineke bu nka, na Ọ ḅawo àmà bayere Ọkpara-Ya. Onye kwere n'Ọkpara Chineke nwere àmà ahu nime ya: onye nēkweghi okwu Chineke emewo Ya onye-ugha; n'ihi na o kweghi n'àmà ahu nke Chineke ḅaworo bayere Ọkpara-Ya. Àmà ahu bu nka, na Chineke nyere ayi ndu ebighi-ebi, ndu ahu di nime Ọkpara-Ya. Onye nwere Ọkpara ahu nwere ndu ahu; onye nēnweghi Ọkpara Chineke enweghi ndu ahu.
>
> Ihe ndia ka m'degara unu n'akwukwọ, bú ndi kwere n'aha Ọkpara Chineke, ka unu we mata na unu nwere ndu ebighi-ebi. (1 Jọn 5:9-13a).

Lee ka nke a si bụrụ ihe na-atọ ụtọ nke na-enweghị nsogbu ndị na-enweghị isi. Ebe ọ bụ na anyị na-anabata àmà ụmụ mmadụ na-agba, Ọ̀ bụ na anyị ekwesịghị ịnabata àmà Chineke ọbụna karị? Ime nke a bụ inwe ihe àmà ahụ n'ime anyị. Ihe megidere nke a "ekweghị ekwe" bụ ime ka Chineke bụrụ onye ụgha.

Ọzọkwa, àmà Chineke na-ekwupụta onyinye nke ndụ nke Chineke na-enye site N'Ọkpara Ya, nke mere na a na-enweta ndụ a na Ọkpara ahụ n'onwe ya n'otu oge. N'ihi ya, ndị mbụ gụrụ ya ma kwere nwere nkwa Chineke na ndụ ebighi ebi bụ nke ha. Ihe àmà ya nke a pụrụ ịtụkwasị obi ruo n'ókè na-enweghị nsọtụ bụ ihe ndabere maka obi ike onwe onye ha!

Mgbe mmadụ nwere okwu Chineke maka ya, ọ dịghị ya mkpa ịrịọ maka mmesi obi ike n'ebe ọzọ.

*Mmechi*

N'otu akụkụ Akwụkwọ Nsọ a ma ama banyere Ebreham, bụ́ onye nlereanya Baịbụl nke okwukwe na-azọpụta ndụ, Pọl dere, sị: “N'ihi na ọ̀ bu gini ka ihe edeworo n'akwukwọ nsọ nēkwu? Abraham we kwere Chineke, ewe gua nke ahu nye ya dika ezi omume.” (Ndị Rom 4:3).

Onye ọ bụla kwesịrị ịhụ nke ọma otú nke a si dị mfe. Ebreham kwere okwu Chineke gwara ya - o kwere ihe Chineke kwuru - e wee gụọrọ ya nke a dị ka ezi omume. N'ikwu ya n'ụzọ ọzọ, e sitere n'okwukwe kpọọ ya onye ezi omume.

Ya mere, okwukwe bụ ikwere n'Okwu Chineke. Okwukwe na-azọpụta bụ iwere Chineke n'okwu Ya n'ozioma. Ọ dịghị ihe ọzọ ọ bụ ma ọ bụghị nke a. Ma ọ bụ naanị nke ahụ—enweghị ihe ọzọ.

Mgbalị ịgbakwunye ya ihe bụ ntụpọ dị mwute n'akụkọ ihe mere eme nke chọọchị ndị Kraịst. Mgbalị a gbanyesiri mkpọrọgwụ ike n'ụfọdụ ozizi mgbe Ndozigharị chọọchị gasịrị.[8] N'etiti ndị na-asụ Bekee, a na-akpọkarị echiche a gbanwere agbanwe nke okwukwe na-azọpụta ihe ozizi Puritan. Taa, Usoro nzọpụta dabeere na ọrụ na-agbasa ozizi ndị Puritan nke o si na ya pụta.[9]

Ma taa, dị ka ọ dị mgbe nile, mgbe e kwere ka Akwụkwọ Nsọ kwuo okwu n'onwe ya - na mgbe chọọchị nwere ntị dị njikere ịnụ ha - ịdị mfe na nnwere onwe nke nzọpụta nwere ike ịpụta ọzọ dị ka ike dị mkpa n'uche ụmụ Chineke.

Ọ dịghị ihe a na-achọsi ike karịa nsonaazụ a. Ma ka e wee mezuo ebumnuche dị otú ahụ, e nwere otu ihe anyị na-aghaghị ịkpachapụ anya ime. Anyị ekwesịghị ịda n'oge a dị oké mkpa. N'ikwu ya n'ụzọ dị mfe, anyị aghaghị ikwe ka okwukwe bụrụ nanị okwukwe.

# Isi Nke 3

# Ì Kweere Nke A?

N'otu oge na-agbawa obi ná ndụ Mata onye Betani, bụ́ onye nwanne ya nwoke bụ́ Lazarọs nwụrụ, Onyenwe anyị Jizọs Kraịst jiri okwu dị ebube bịakwute ya. Ọ sịrị ya:

> Mu onwem bu nbilite-n'ọnwu na ndu: onye nēkwere na Mu, ọbuná ma asi na ọ nwuru anwu, ọ gādi ndu ọzọ: ọzọ, onye ọ bula nke nādi ndu, nke nēkwere kwa na Mu, ọ gaghi-anwu ma-ọli rue mbe ebighi-ebi. (Jọn 11:25-26).

Mgbe ahụ , ọ jụrụ ajụjụ mkpebi: I kwere nka? (Jọn 11:25-26).

A na-ekwukarị site n'aka ndị na-akụzi nzọpụta dabeere na ọrụ na okwukwe na-azọpụta enweghị ike ịbụ naanị "ikwere n'eziokwu." Ma nkwupụta a dabeere na njehie ma ọ bụghị eziokwu. Ọ pụghị iguzogide nnyocha e ji Baịbụl mee.

Mgbe Onyenwe anyị Jizọs na Mata na-akparịta ụka, o kwuru ihe ụfọdụ na-atụ n'anya. Ọ na-ekwupụta na Ya onwe ya bụ Mbilite n'Ọnwụ na Ndụ. Ọzọkwa, Ọ na-ekwupụtara ya ike Ya iji kwado ọdịnihu ebighị ebi nke onye ọ bụla nke kwere na Ya. Ọ bụrụ na ha anwụọ, Ọ ga-akpọlite ha. Ọ bụrụ na ha dị ndụ, ebe ọ bụ na Ọ na-enye ndụ ebighị ebi, e nwere echiche nke na ha adịghị anwụ ma ọlị

Ọ dịghị ihe ọ bụla dị obere banyere nke ọ bụla n'ime eziokwu ndị a. N'ezie, ha bụ ihe ịma aka karịrị ihe a pụrụ ịkọwa.

Jizọs guzoro n'ihu Mata n'ụdị mmadụ. N'agbanyeghị nke ahụ, ọ jụrụ ya ma ọ̀ nabatara eziokwu banyere Onwe ya nke anya ya na-apụghị ịhụ ma ọlị, "nke ọ nweghị onye ọzọ pụrụ ikwu n'agaghị enwe ọmụma ikpe nke ikwulu Chineke. Ọ ga-abụrịrị na Mata nwere okwukwe siri ike nke mere o ji kwere ihe ndị a!

*Okwukwe na Eziokwu*

Ọ bụ otu n'ime akụkụ dị mwute nke echiche ndị na-ezisa ozi ọma taa bụ na anyị enwekwaghị ekele maka ịdị ebube nke okwukwe dị mfe na Kraịst. Ọ bụ ezie na anyị bi n'ụwa nke na-ekpere arụsị n'ụzọ na-arịwanye elu, bụ́ ebe ọbụna ikwere n'ịdị adị nke Chineke na-ebelata, nkwanye ùgwù anyị nwere maka ịtụnanya nke nke ntụkwasị obi dị ka nke nwa n'ebe Chineke nọ na-ebelata nwayọ nwayọ.

Akwụkwọ Nsọ Agba Ọhụrụ ekwekọghị n'echiche anyị nke oge a. Ndị dere Akwụkwọ Nsọ maara nke ọma otú gburugburu ebe obibi ha si bụrụ ebe na-adịghị mma maka ịnakwere eziokwu ndị Kraịst. Ọ dịghị ihe ọ bụla kpaliri ha ileda anya uru ọ bara "ikwere n'ihe ndị bụ́ eziokwu" banyere Ọkpara Chineke . Ha ghọtara nke ọma otú nke ahụ si siere ma ndị Juu ma ndị Jentaịl ike.

N'ihi ya, o doro anya na ihe Mata zara Onyenwe anyị kwesịrị ka a jaa ya mma.N'ihi na n'ịzaghachi ajụjụ Onye Nzọpụta, "I kwere nke a?" Ọ na-enye azịza a: "E, Onye-nwe-ayi: Mu onwem ekwerewo na Gi onwe-gi bu Kraist-ayi, Ọkpara Chineke, Onye nābia n'uwa." (Jọn 11:27).

Anyị ekwesịghị ịjụ ihe mere Jọn onyeozi ji tinye nzaghachi a n'akwụkwọ ya. Ihe kpatara ya doro anya. Mata na-ekwupụta nkwenye ya n'eziokwu ndị ahụ Jọn chọrọ ka ndị niile na-agụ akwụkwọ ya kwere. N'ihi na na ọkwa nke nzube ya maka ide ihe, Jọn na-ekwupụta n'ụzọ doro anya:

> Ya mere ọtutu ihe-iriba-ama ọzọ ka Jisus mere n'iru ndi nēso uzọ-Ya, nke anēdeghi n'akwukwọ a: ma edewo ihe ndia n'akwukwọ, ka unu we kwere na Jisus bu Kraist ahu, Ọkpara Chineke; ka unu we nwe kwa ndu n'aha-Ya n'ihi na unu kwere. (Jọn 20:30-31)

Ka a ghara inwe mgbagwoju anya na n'ezie anyị na-ekwu banyere "ikwere eziokwu." Jisus siri, Ì kwere nka? Mata wee zaa, "Mu onwem ekwerewo na *Gi onwe-gi bu..."* Jọn chọkwara ka ndị na-agụ akwụkwọ ya "kwere *na Jizọs bụ...* "O doro anya na okwukwe anyị na-ekwu okwu ya dabeere n'ihe ndị mere eme.

Ma e nwere ihe ọzọ dị mkpa dị ná mkparịta ụka ahụ Jizọs na Mata nwere. Eziokwu ndị Onyenwe anyị kọwaara ya karịrị nnọọ eziokwu. Ha bụ eziokwu *na-azọpụta*. Nke ahụ bụ, ha bụ *eziokwu Chineke kpughere, ndị a ga-ekwere iji nweta nzọpụta*. N'ihi ya, ihe a Jizọs gwara Mata bụ otú Jọn si na-agwa anyị ihe ọ pụtara ikwere na Jizọs bụ Kraịst, Ọkpara Chineke.

Taa, ọtụtụ ndị na-ekwu na ha kweere na Jizọs bụ Ọkpara Chineke. Nye ha, o doro anya na ọ bụkwa ya bụ "Kraịst." ha pụrụ ịsị, "ọ́ bụghị nke ahụ bụ aha Ya?"

Ma ọ bụrụ na a jụọ ha ma Jizọs ọ̀ na-ekwe nkwa mbilite n'ọnwụ na ndụ ebighị ebi nye ndị mmadụ nanị n'ihi okwukwe ha, azịza ha pụrụ ịbụ ihe na-adịghị mma. "N'ezie ọ bụghị," ha pụrụ ikwu, "ị ghaghịkwa ibi ndụ ziri ezi iji nweta ndụ ebighị ebi!" Site n'ikwu otú ahụ, ha ga-ekpughe n'ụzọ doro anya na *ha ekweghị* ihe Onye Nzọpụta ahụ gwara Mata ka o kwere.

Ọ bụghị ihe nile e kwuru banyere Chineke bụ eziokwu na-azọpụta ndụ. Iji maa atụ, ikwere na ịdị n'otu nke Chineke (na Chineke bụ Otu) anaghị azọpụta onye ọ bụla. Onye Juu ọ bụla na-ekpe okpukpe Ọtọdọks nke nọ n'ógbè ndị Rom kweere *nke ahụ*. Ya mere, ka otu onye na-emegide Jems na-ekwu, ndi-mọ ọjọ kwe-kwa-ra (Jems 2:19). N'ezie, ịdị n'otu nke Chineke bụ eziokwu Ndị Kraịst dị ebube. Ma ọ dịghị agụnye eziokwu nke ozi ọma ahụ n'onwe ya.

Ma ikwere na Jizọs bụ Kraịst ahụ- *n'echiche Jọn nwere banyere okwu ahụ*—bụ ikwere eziokwu na-azọpụta. N'ezie, ọ bụ ikwere eziokwu ahụ Mata onye Betani kweere. N'ikwu ya n'ụzọ dị mfe, Jizọs na-ajụ Mata ma *ò kweere* na Ya kwere nkwa inye onye ọ bụla *kwere ekwe* ndụ ebighị ebi. Nke ahụ bụ otu ihe ahụ dị ka ịjụ ma eziokwu a dị ebube *ò metụtakwara* ya! Mata gosikwara na nke a bụ eziokwu site n'ikwu na ya kwenyesiri ike banyere onye Ọ bụ.

N'ihi ya, Mata tụkwasịrị ya obi site n'ikwere n'ihe ndị dị ịtụnanya banyere onye Kraịst bụ. Ọ nọ na-etinye ọdịnihu ebighị ebi ya n'aka Ya. Ọ bụrụ na ihe Mata kweere banyere Jizọs abụghị eziokwu, ọ pụtara na okwukwe ya ezighị ezi. Ma ọ bụrụ na ihe ọ kwere bụ eziokwu banyere nke a - ọ bụkwa eziokwu - mgbe ahụ mbilite n'ọnwụ na ndụ ebighị ebi bụ ihe e ji n'aka nye ya. O kwenyesiri ike n'okwu Jizọs.

Ihè niile dabeere n'eziokwu nke ihe ọ kwèrè. Ọ bụghị *ụdị* okwukwè ọ nwere. Ọ kwèrè na ya ma ọ bụ na ọ kwèghị. Nke ahụ bụ ihe niile.

*Okwukwe dịka inweta ihe e nyere*

Site n'ihe nile e kwuru, o kwesịrị ịpụta ìhè na ọ dịghị ihe dị njọ "n'ikwere n'eziokwu" ma ọ bụrụ na eziokwu ndị ahụ bụ nke ziri ezi. N'otu aka ahụkwa, ọ dịghị ihe dị njọ n' "ikwere

n'eziokwu" iji bụrụ ndị a zọpụtara ma ọ bụrụ na eziokwu ndị ahụ na-azọpụta n'ezie. "Nke a na-eduga anyị n'isiokwu ọzọ dị mkpa.

Mata kweere eziokwu ndị dị mkpa banyere Jizọs, bụ́ ndị ọ ga-ekwere ka e wee zọpụta ya. Ma site n'ime otú ahụ, *o nwetara* n'ezie onyinye nke ndụ ebighị ebi.

O doro anya na ọ bụghị mgbe ahụ ka Mata kwetara ihe ahụ Jizọs gwara ya. Ọ bụghị n'oge ahụ ka o nwetara ndụ ebighị ebi. Kama nke ahụ, Onyenwe ya na-agwa ya ka o kwupụta okwukwe o nweburu.

Nke ahụ ga-abara ya uru. Ọnwụ nwanne ya nwoke ọ hụrụ n'anya mere ka obi gbawaa ya. Ọ dị mkpa ka echetara ya - ọ dị mkpa ka o gosipụta ntụkwasị obi n'Onye ahụ nke na-emeri ọnwụ maka onye ọ bụla kwere na Ya.

Ma o doro anya na obi ike ya sitere n'ịnakwere eziokwu ahụ nke na-eweta nzọpụta n'onwe ya. Ọ natara àmà Chineke gbara banyere Ọkpara Ya (1 Jọn 5:9-13). Site n'ime otú ahụ, o nwetara ndụ ebighị ebi n'onwe ya.

Ya mere, ọ bụghị ihe ijuanya na n'otu n'ime akụkụ ndị kasị mkpa n'oziọma ya dum, Jọn na-egosi okwukwe na-azọpụta ndụ dị ka ihe mmadụ ji aka ya mee. N'ezie, akụkụ Akwụkwọ Nsọ a na-ekwu okwu ya bụ mkparịta ụka ahụ a na-apụghị ichefu echefu Jizọs na nwanyị Sameria nwere. Ọ bụ Jisos setịpụrụ ntụziaka maka mkparịta ụka ha site n'okwu ndị a: "Ọ bụrụ na ị maara onyinye Chineke, na onye ọ bụ nke na-asị gị, "Nye m mmiri ka m ṅụọ, " Ọ buru na i matara onyinye Chineke, na Onye Ọ bu Nke nāsi gi, Nyem miri ka M'ṅua; gi onwe-gi gāriọ Ya-ri, Ọ gēnye kwa gi miri di ndu." (Jọn 4:10).

"Ihe ị ga-eme," ka Onyenwe anyị na-ekwu, bụ *iwere* ihe m chọrọ inye gị. Ma iji mee nke ahụ, ọ dị gị mkpa ịmata ihe ụfọdụ. Ọ dị gị mkpa ịmata ihe onyinye Chineke bụ, ị kwesịrị ịmakwa onye m bụ."

Ọ̀ dị ihe doro anya ma ọ bụ dị mfe nghọta karịa nke a? Nwanyị a nke mmehie na-anyịgbu apụghị inweta ndụ ebighị ebi ọ gwụla ma ò nwetara ihe ọmụma dị oké mkpa. Ọ dị ya mkpa ịmara ihe ụfọdụ banyere onyinye a, ọ dịkwa ya mkpa ịmara ihe ụfọdụ banyere Onye na-enye ya onyinye ahụ.

A haziri mkparịta ụka nile na-eso ya iji nye ya ihe ọmụma dị mkpa. Onyinye Chineke bụ mmiri nke ndụ (Jọn 4:13-14). Ọ bụghị, dị ka o chere na mbụ, ụdị mmiri nke ga-emeju akpịrị ịkpọ nkụ ya (Jọn 4:15). Kama, ọ bụ mmiri e mere iji gboo akpịrị ịkpọ nkụ n'ụzọ *ime mmụọ*, n'ihi na nwanyị ahụ bụ onye mmehie mara ikpe (Jọn 4:16-18)

Ma nke ahụ bụ nanị ọkara nke eziokwu ọ dị mkpa ka ọ mara. Ọ dịkwa ya mkpa ịmata Onye ahụ na-agwa ya okwu. Jizọs ji nlezianya na-eduzi ya n'ebe ihe mgbaru ọsọ ahụ dị.

Nwanyi ahụ nwere obi mgbawa n'ihi na Onyenwe anyị kpughere n'ụzọ a na-atụghị anya ya, ndụ ya nke na-amịghị mkpụrụ. Ngwa ngwa ọ gbanwere isiokwu ahụ gaa n'okpukpe n'ozuzu ya. Ma ọ gara n'ihu ikweta na onye ahụ guzo n'ihu ya bụ n'ezie onye amụma. (Jọn 4:19-20).

Otú ọ dị, ọ karịrị nke ahụ n'ezie! N'okwu na-akpali akpali Jizọs gwara ya ná nzaghachi (Jọn 4:21-24), ọ hụrụ ihe karịrị amụma. N'ihi ya, nwanyị ahụ na-ekwu, sị: " Amataram na Mesaia nābia (Onye anākpọ Kraist): mbe ọ bula Onye ahu gābia, Ọ gākọrọ ayi ihe nile. (Jọn 4:25).

Nzaghachi nke Onye nzọpụta dị nkenke ma doo anya: "Mu onwem Nke nāgwa gi okwu bu Ya." (Jọn 4:26). Site n'ihe a na-awụ akpata oyi n'ahụ, ajụjụ ọnụ ahụ bịara ná njedebe.

Nwanyị ahụ ọ̀ kwere na nkwupụta a? Ee, o kwere ya. ya. N'ezie, n'obodo ebe aha ya dị ala, o ji nlezianya kwuo okwu ( "Onye a ọ̀ pụrụ ịbụ Kraịst ahụ?" Jọn 4:29).

[1] Ma ndị ikom ahụ ọ gbara àmà nye maara na o kwenyere na ya (Jọn 4:42). Ma, ọ bụ ezie na ha achọghị inye ya otuto ọ bụla, ha onwe ha kwerekwa ya.

N'eziokwu, nkwupụta okwukwe ha na-egosipụta kpọmkwem nkwenye ahụ anyị hụkwara Mata ka o gosipụtara. Ha na-ekwu, sị:

> 'Ọ bughi n'ihi ihe i kwuru ka ayi nēkwe ubu a: n'ihi na ayi onwe-ayi anuwo, mata kwa na Onye a *bu Onye-nzọputa nke uwa* n'ezie." (Jọn 4:42, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche).

Ha kwenyere n'eziokwu, ma lee ka o si bụrụ eziokwu dị ebube! Onye Juu a dị umeala n'obi nke na-aga njem bụ Kraịst nke Chineke! Ya mere, ọ bụkwa Onye Nzọpụta nke ụwa - nke ahụ gụnyere ndị Sameria. Na nkenke, Ọ bụ Onye Na-enye ndị mmehie ndụ ebighị ebi.

A na-ahụkarị na Onyenwe anyị kwuru okwu ikpeazụ na mkparịta ụka ya na nwanyị ahụ si Saịka. Okwu ahụ bụ́ "Abụ m Ya" adịghị esochi arịrịọ nwanyị ahụ rịọrọ ya maka ezi mmiri na-enye ndụ. N'ezie, ọ dịghị ihe ọ bụla ọ gwara *Ya*. Ihe o nwere ikwu ugbu a bụ maka ndị ikom nke obodo ya.

Ma, ihe Jizọs kwere ya ná nkwa emezuola. Okwu ahụ dị na Jọn 4:10 emezuwo.

Nwanyi ahu siri, "Amataram na Mesaia nābia (Onye anākpọ Kraist): mḅe ọ bula Onye ahu gābia, Ọ gākọrọ ayi ihe nile. (Jọn 4:25). Ma okwu ndị a bụ n'ezie arịrịọ. Ha pụtara ihe dị ka nke a:

> Biko, gwa m! Ị̀ bụ Mezaịa ahụ na-abịanụ? Ị̀ bụ n'ezie Onye Nzọpụta nke ụwa?

Ya mere, ọ rịọla, dị ka Jizọs kwuru na ọ ga-arịọ. N'ihi ya, O nyere, dị ka O kwuru na Ọ ga-enye. Nzaghachi Ya—onyinye Ya—bụ eziokwu na-azọpụta nke Oziọma Jọn dum: "Mu onwem Nke nāgwa gi okwu bu Ya" (Jọn 4:26). Ma ọ bụ, iji kwugharịa ya n'ụzọ ọzọ, Jizọs zara, sị: "Abụ m Kraịst ahụ, Onye Nzọpụta nke ụwa!"

Ya mere, mgbe nwanyị ahụ ji okwukwe nata eziokwu a na-azọpụta, ọ dịghị ihe ọzọ ọ natara ma ọ bụghị onyinye Chineke. Àmà Chineke gbara banyere Ọkpara Ya - *Okwu* ya *dị ndụ* - dịzi n'ime ya. Okwukwe ya bụ ihe o ji aka ya mee. Site na ya, o nwetara mmiri karịrị nke mmadụ nke na-enye ndụ ebighị ebi.

*Mmechi*

N'isiokwu mmechi nke akwụkwọ ozi mbụ ya, onyeozi Jọn dere okwu ndị a:"Onye ọ bula nke kwere na Jisus bu Kraist ahu, amuwo ya site na Chineke" (1 Jọn 5:1). Nke a bụ ihe doro anya dị ka o kwere mee. O kwekọkwara nnọọ n'ihe anyị ka gụpụrụ n'Oziọma Jọn.[2]

Eziokwu ahụ bụ na Jizọs bụ Kraịst - eziokwu ahụ bụ na Ọ bụ Onye na-enye ndụ ebighị ebi nye onye kwere ekwe—bụ eziokwu na-azọpụta. Ikwere n'eziokwu a na-eme ka a mụọ mmadụ ọzọ ozugbo - ma bụrụ onye a mụrụ ọzọ ruo mgbe ebighị ebi.

N'ihi ya, ọ dịghị ihe dị ka ikwere n'ozi nzọpụta n'enwetaghị ndụ ebighị ebi n'otu oge ahụ. "Onye ọbụla" - ọ bụghị naanị ụfọdụ ma ọ bụ ọtụtụ "ma Onye ọbụla kwere na Jizọs bụ Kraịst bụ onye Chineke mụrụ." Ọ dịghị onye agụpụrụ.

Otú a ka onyeozi ahụ kwuru.

Ma ọtụtụ ndị na-eso ụzọ Kraịst nke oge a adịghị aghọta otú ihe a nile si dị nnọọ mfe nghọta. N'ezie, ọ na-atụ ha ụjọ, Ha na-agbalịkarị izere ya site na ikowa okwukwe na-azọpụta n'uzo puru iche. Ka ha na-eme nke a, Ha na-eme ka ihe okwukwe pụtara n'ezie bụrụ ihe na-

edochaghị anya na ihe siri ike nghọta ma na-agbagọkwa ozi Baịbụl banyere amara n'ụzọ dị mwute.

N'ezie, ha na-agbalị ịrụ ọrụ ọ bụ naanị Chineke kwesịrị ịrụ. Mgbe anyị na-eme otú ahụ, ọ na-abụkarị njehie dị ukwuu ma ọ na-ewetakarị nsogbu. N'ọnọdụ a, ọ bụ nnọọ ọdachi. N'ihe banyere nke a, ọ bụ ọdachi n'ezie.

A ga-akọwa ihe kpatara nke a n'isiakwụkwọ na-esonụ.

# Isi Nke 4

# Gịnị Mere n'Ezie?

Jemes, onye otu nne ji ya na Onyenwe anyị, dere otu amaokwu magburu onwe ya banyere ịmụ mmadụ ọzọ. Ọ malitere site n'ikwu okwu n'ụzọ doro anya banyere ikike dị ebube Chineke nwere inye ihe. O kwuru, sị: "Ezi onyinye ọ bula na ihe ọ bula zuru okè nke enyere enye si n'elu bia, ebe o si n'aka Nna nke ìhè ridata, Onye ọghugha ọ bula nāpughi idi n'ebe Ọ nọ, ma-ọbu onyinyo nke nchighari nēweta." (Jemes 1:17).

Dị ka ihe atụ magburu onwe ya nke ikike Chineke nwere inye onyinye, ọ na-agbakwụnye, sị: "N'ihi na O zubere ya O were okwu nke ezi-okwu muputa ayi, ka ayi we buru otù aha nkpurú mbu nke ihe O kère èkè." (Jemes 1:18).

Anyị kwesịrị ịṅa ntị nke ọma n'ihe Jemes na-ekwu n'ihi na ọ bara uru. Ọ na-ekwu banyere onyinye ahụ Jizọs nyere nwanyị Sameria. Dịkwa ka Onyenwe anyị, Jemes na-ekwu maka ọrụ ebube nke eziokwu Chineke rụrụ: "O were okwu nke ezi-okwu muputa ayi."

Otú ọ dị, na chọọchị nke oge a, ntụkwasị obi e nwere n'ike ọrụ ebube nke eziokwu Chineke ebelatala nke ukwuu. Ndị nkụzi nzọpụta dabeere na ọrụ na-egosipụta ụjọ mgbe a na-ekwusara ndị mmadụ ozi ọma dị ka onyinye e nyere n'efu. Kama ịkpọrọ oké mmesapụ aka nke Chineke isiala, ha na-ekwutọ ya dị ka ngosipụta nke "amara dị ọnụ ala" ma ọ bụ "nkwenkwe dị mfe".

O doro anya na ọtụtụ n'ime ha nwere nchegbu n'eziokwu maka ihe ha hụrụ dị ka ọnọdụ omume dara ada nke chọọchị. Ma ọgwụgwọ ha na-atụ aro ya dị nnọọ njọ karịa ọrịa ha chere na ha achọpụtala.

Ka e kwuo ya n'ụzọ doro anya na itinye ọnọdụ siri ike na usoro nke nzọpụta abụghị ihe ngwọta ma ọlị. N'ezie, ọ na-emebi ihe kpamkpam. Ihe ọ ga-eme, n'ezie, bụ ịkpọbata n'ime ụka ọtụtụ ndị bụ ndị bịara abịa n'amara Chineke. Maka ndị nọbu n'ụka, ọ ga-eme ka ozi nzọpụta ghara idozi ma bibie ihe ndabere nke obi ike ha.

Ka e kwuo ya n'ụzọ doro anya na ịgbakwunye ọnọdụ ndị siri ike na usoro nke nzọpụta abụghị ihe ngwọta ma ọlị. N'ezie, ọ na-emebi ihe. Ihe ọ ga-eme, n'ezie, bụ ịkpọbata n'ime chọọchị ìgwè mmadụ ndị na-amaghị amara Chineke. Nye ndị nọworị n'chọọchị, ọ ga-eme ka ozi nzọpụta ghara ịpụta ìhè ma bibie ihe ndabere nke obi ike ha.

Ụdị ozizi dị otú a na-akpata nkụda mmụọ, ọdịda, na enweghị olileanya. A na-enwe mmetụta nke ihe ndị a taa n'ọgbakọ ndị a na-ekwusa usoro nzọpụta dabeere na ọrụ.

Ya mere, n'ikpeazụ, ọ dịghị ihe pụrụ ịnọchi anya ọrụ ebube nke ịmụ mmadụ ọzọ.

*Ọ Ga-ewe Ọrụ Ebube.*

Site n'okwu ndị na-adịgide adịgide, onye na-ede egwú edewo,

Ọ bụ ọrụ ebube mere ka kpakpando dịrị n'ọnọdụ ha,
Ọ bụ ọrụ ebube mere ka ekokwasị ụwa n'elu mbara igwe;
Ma mgbe Ọ zọpụtara mkpụrụ obi m,
Sachaa ma mee ka m zuo oke,
Ọ bụ ọrụ ebube nke ịhụnanya na amara!

- John W. Peterson
*Ọ were ọrụ ebube*

Okwu ndị a bụ eziokwu n'ihi na ha kwekọkwara na Baịbụl.

Anyị ahụworị na Jọn onyeozi kwupụtara na ịnata àmà Chineke gbara banyere Ọkpara Ya bụ inwe àmà ahụ n'ime anyị (1 Jọn 5:9-10). Anyị nwere ike iji nke a tụnyere nkwupụta nke Pita onyeozi na anyị 'ebe amuworo unu ọzọ, esiteghi na nkpuru apuru imebi, kama esitere na nke anāpughi imebi, site n'okwu Chineke, nke di ndu, nke nādigide kwa, mu unu ọzọ.' (1 Pita 1:23). N'oge na-adịghị anya mgbe nke ahụ gasịrị Pita na-agbakwụnye, ".Nka bu kwa okwu nke ozi ọma ahu ezisara unu" (1 Pita 1:25).

Akwụkwọ Nsọ nke Agba Ọhụrụ na-akụzi n'ụzọ doro anya na ozi nke Oziọma bụ ike Chineke ji amụgharị mmadụ ọzọ. Ọ bụ ya - ọ bụkwa nanị ya - bụ mkpụrụ dị ike nke na-enye ndụ, nke na-agbanye kpọrọgwụ n'obi mmadụ mgbe e ji okwukwe nabata Okwu ahụ.

Ọ bụ ya mere na ọ baghị uru ikwu na ezi okwukwe enweghị ike ịdabere n'ihe ndị mere eme. Ọ bụrụ na ihe ndị ahụ bụ akụkụ nke ozi nzọpụta Chineke na-ezi ndị mmadụ, mgbe ahụ ihe ndị ahụ bụ eziokwu Chineke. A na-achọta ma na-akọwa eziokwu ndị a n'Okwu Chineke. N'ebe ọ bụla kwa Okwu Chineke dị, n'ebe ahụkwa ka ike Ya dị.

Ma ọ dịghị ike dị n'okwu mmadụ. Nke ahụ bụkwa kpọmkwem ihe nzọpụta dabeere na ọrụ bụ n'ezie. Dị nnọọ ka ndị okpukpe siri ike n'oge ochie, ndị na-akụzi banyere usoro nzọpụta dabeere na ọrụ kweere na mmadụ aghaghị iru ụkpụrụ ụfọdụ iji nweta ndụ ebighị ebi. Ha amaghị na Chineke nwere ike ịhụ ndị mmehie n'anya n'enweghị ihe ọ bụla ọ chọrọ ha n'aka.

Ihe mere ozi nzọpụta Chineke ji dị iche na okwu mmadụ bụ na amara Ya bụ n'efu, Ọ enweghịkwa ọnọdụ ọ bụla Ọ na-enye mmadụ. Lee ka nke a si pụta ìhè n'otu akụkụ Akwụkwọ Nsọ nke anyị rụtụrụlarị aka ọtụtụ oge: Mọ Nsọ na nwanyi ahu anālu ọhu nāsi kwa, Bia. Onye nānu, ya si kwa, Bia. Onye akpiri nākpọ kwa nku, ya bia: onye nāchọ, ya nara miri nke ndu ahu n'efù.

Lee ozi doro anya nke a na-enye n'okwu ndị a! Ọ bụrụ na akpịrị na-akpọ onye ọ bụla nkụ, ọ nwere ike ịṅụ mmiri a. Ma chere! Ikekwe ọbụna nke ahụ siri nnọọ ike. Ya mere, Mmụọ Nsọ na-agbakwụnye, "onye ọ bụla nke chọrọ" - onye ọ bụla nke chọrọ! - ka ọ ṅụọ mmiri a n'enweghị ọrụ. Ka o were ya n'efu.

Gịnịkwa na-eme ndị na-ewere mmiri ahụ? Gịnị na-eme ndị kwere n'ọkpụkpọ òkù a?

Ihe *ọrụ ebube* mere na ndụ ha. A na-amụ ha ọzọ. Chineke na-enye ha ndụ ọhụrụ. Site ná ndụ a, ha na-anabatakwa Ọkpara Chineke (1 Jọn 5:12). *Jizọs bụ ndụ ahụ* (1 Jọn 5:20c), Ọ na-ebikwa n'ime ha ugbu a. (Kọl 1:27).

Olee otú e si mezuo ọrụ ebube a n'ime ha? Site n'Okwu Chineke nke dị ndụ ma na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi. Ma ọ bụ, dị ka Jems ga-asị, "Site n'uche nke ya, o ji okwu eziokwu mụta anyị."

*Ọ Na-eme Ka Obi Sie Anyị Ike*

Abụ ọzọ na-adọrọ adọrọ nke mere ka okwu ya bụrụ ihe a na-apụghị ihichapụ ehichapụ n'ime mkpụrụ obi nke chọọchị:

Obi ike a gọziri agọzi, Jizọs bụ nke m!
Lee ihe atụ nke ebube Chineke nke a bụ!
Onye nketa nke nzọpụta, Chineke zụputara,

A mụrụ site na Mmụọ Ya, sachapụ m n'ọbara Ya.

-Fanny J. Crosby and Mrs. J. F. Knapp
*Blessed Assurance*

O doro anya na ndị inyom ahụ nyere anyị abụ otuto a aghọtawo isi ihe dị n'ozi ọma Baịbụl. Okwu ha na egwu ha bụ onyinye na-adịghị anwụ anwụ nye ọdịdị nke ozi nke amara. N'ikwu ya n'ụzọ dị mfe, Ozi ọma a na-eme ka obi sie anyị ike na a zọpụtala anyị.

Ma, olee otú e si eme ka obi sie ha ike? Azịza ya kwesịrị ịpụta ìhè ugbu a. Otu Okwu ahụ na-arụ ọrụ ebube nke na-eme ka a dịghachi ndụ na-emekwa ka obi sie onye ahụ kwere ekwe ike. N’ezie, ihe abụọ ahụ na-eme n’otu oge ma a pụghị ikewa ha.

Ma ọ bụ, n'ikwu ya n'ụzọ ọzọ, mgbe mmadụ kweere, onye ahụ nwere mmesi obi ike nke ndụ ebighị ebi. Olee otú ọ pụrụ isi bụrụ na ọ bụghị otú ahụ? Dị ka ihe atụ, tụlee ihe Jizọs kwuru:

N'ezie, n'ezie, asim unu, Onye nānu okwum, nke nēkwere kwa Onye ziterem, o nwere ndu ebighi-ebi, ọ biaghi kwa n'ikpé, kama o sitewo n'ọnwu ba na ndu. (Jọn 5:24)

Nke a doro nnọọ anya. Onye kwere ekwe, ka Onyenwe anyị na-ekwu, nwere ndụ ebighi ebi. Ọzọkwa, a gaghị ekpe ya ikpe. N'ezie, o siworị n'ọnwụ gafee ná ndụ. Ikwere n'Okwu Ya bụkwa ikwere ihe ndị a.

N'ihi ya, ọ gaghị ekwe anyị omume ikwere n'ozi ọma ahụ ma ọ bụrụ na anyị amaghị na a zọpụtala anyị. N'ihi na ozi ahụ na-enye ihe mmesi obi ike nke ya. N'ihi ya, inwe obi abụọ banyere nkwa nke ndụ ebighị ebi bụ inwe obi abụọ banyere ozi ahụ n'onwe ya.

N'igbu ya nkenke, ọ bụrụ na ekweghị m na a zọpụtara m, ekweghị m n'ihe Chineke kwere nkwa inye m.[1]

Nke ahụ na-eme ka anyị laghachi n'ihe banyere Martha. Mgbe Mata kwupụtara na ya kwenyere na Jizọs bụ “Kraịst, nwa Chineke” (Jọn 11:27), ọ na-aza okwu ndị a, “I kwere nke a?”

Ma okwu ahụ bụ́ “nke a” na-ezo aka n'ihe dị mkpa Jizọs kwuru. N'ezie, ọ dị ụzọ abụọ O si gwa ya na Ya na-ekwe nkwa ọdịnihu ebighị ebi nke onye ọ bụla kwere ekwe. Nke mbu, O kwuru si: “onye nēkwere na Mu, ọbuná ma asi na ọ nwuru anwu, ọ gādi ndu ọzọ” (Jon 11:25).

Nke abuo, O kwuru si, “onye ọ bula nke nādi ndu, nke nēkwere kwa na Mu, ọ gaghi-anwu ma-ọli rue mḅe ebighi-ebi.” (Jon 11:26).

Nkwupụta ukwu abụọ a so n'okwu ahụ “nke a” mgbe Jizọs kwuru, “I kwere nke a?” Nke a na-egosi na ọ bụrụ na Mata kwenyere “nke a,” o kwenyere “nke a” gbasara onwe ya.

N'ezie, ịgọnahụ “nke a” maka onwe ya ga-abụrịrị ịgọnahụ na “onye ọ bula nke nādi ndu, nke nēkwere kwa na Mu, ọ gaghi-anwu ma-ọli rue mḅe ebighi-ebi.” Ma Mata kweere, n'ime otú ahụkwa, ọ maara na ya onwe ya agaghị anwụ ma ọlị.

N'ikwu ya n'ụzọ dị mfe, dị ka ndị kwere ekwe nile, n'oge okwukwe na-azọpụta ndụ, Mata maara na ya nwere ndụ ebighị ebi.

Ma nke a abụghị ikwu na, ma e mesịa, Mata agaghị enwe ike inwe obi abụọ banyere eziokwu a. Ọbụna Jọn Onye Na-eme Baptizim nwere obi abụọ (Luk 7:18-20). Ma ọ bụ ikwu nke a: onye na-enwetụbeghị obi ike maka ndụ ebighị ebi ekwetụbeghị ozi nzọpụta Chineke.

N'ezie, mgbe a tụlere okwu ahụ nke ọma, eziokwu a pụtara nnọọ ìhè n'ihe ndị e kwuru ugboro ugboro n'Oziọma Jọn. Ọ pụtara ìhè ọbụna n'amaokwu nzọpụta kasịnụ. N'ihi na n'okwu ndị ọtụtụ ndị kwere ekwe maara n'obi, onyeozi ahụ hotara Onyenwe anyị ka ọ na-ekwu, sị: “N'ihi na Chineke huru uwa n'anya otú a, na Ọ nyere ọbuná Ọkpara Ọ muru nání Ya, ka onye ọ bula nke kwere na Ya we ghara ila n'iyì, kama ka o nwe ndu ebighi-ebi” (Jọn 3:16).

Ma n'ebe a kwa, anyị na-ahụ otu ihe ahụ Jizọs gwara Mata. Ọkpara ahụ Chineke nyere bụ Onye ahụ e si n'aka ya nweta ndụ ebighị ebi site n'okwukwe. Ya mere, onye ahụ kwere ekwe nwere ndụ ahụ, n'ihi ya kwa, ọ dịghị ila n'iyì.

Ozi dị n'amaokwu abụọ ahụ bụ otu.

*Mmechi*

Gịnị n'ezie na-eme mgbe mmadụ kweere n'okwu nzọpụta nke ozi ọma ahụ? E nwere ọtụtụ azịza nye ajụjụ a, a ga-atụle ụfọdụ n'ime ha na peeji ndị na-esonụ. Ma ọ dịkarịa ala, e nwere ihe abụọ dị oké mkpa nke na e kwesịghị ichefu ma ọlị.

Otu bụ na a na-amụ onye ahụ kwere ekwe ọzọ n'ụzọ ọrụ ebube nke na onye ahụ na-enweta ndụ Chineke.

Nke ọzọ bụ na onye ahụ kwere ekwe maara na ya nwere ndụ a.[2]

Eziokwu abụọ a na-eme ka onyinye Chineke bụrụ nke 'dị mma na nke zuru okè' dị ka Jems na-ekwu na onyinye Chineke na-adị mgbe nile. Ọ dịghị onye pụrụ ịmalite ibi ndụ ọhụrụ ruo mgbe o bu ụzọ nata ndụ ahụ site n'okwukwe. Ọ dịghịkwa onye ga-enwe ike ibi ndụ ahụ n'ụzọ dị irè ma ọ bụrụ na o jighị n'aka na o nwere ya n'ezie. 'Ezi onyinye ahụ na nke zuru okè' Chineke na-enye na-egbo mkpa abụọ ndị a bụ́ isi, a na-ezukwa ha n'otu oge ahụ e nwere okwukwe.

N'ezie, e nwere ndị nọ na chọọchị taa a na-amụbeghị ọzọ. Ma, ọ bụ anyị kpatara ya, ọ bụghị Chineke. A pụghị ịta nke a ụta n'ihi eziokwu ahụ bụ́ na Chineke na-enye nzọpụta n'efu. Ọzọkwa, a gaghị edozi nsogbu ahụ site n'itinye ọnọdụ ndị Akwụkwọ Nsọ na-akwadoghị n'ozi nke amara.

Mkpa anyị bụ isi n'ụzọ Chinek pụọ. Anyị aghaghị ịkwụsị ịnwa ịrụrụ Ya ọrụ. Ọ dịghị ozizi aka ike nke nzọpụta dabeere na ọrụ ọ bụla ga-eme ka a mụọ mmadụ ọzọ. N'ezie, ozizi dị otú ahụ bụ ihe mgbochi e debere n'ụzọ ọrụ ebube ahụ.

Ihe dị mkpa bụ naanị Oziọma ahụ dị mfe, na-eme ka o doo anya na ọ bụ n’ezie—n’efu! Ọ bụ nanị nke a mejupụtara Okwu Chineke nke na-azọpụta ụmụ mmadụ. Ọ bụkwa nanị nke a na-arụzu ọrụ ebube nke ịmụghari ọhụrụ.

# Isi Nke 5

# Enweghị Nloghachi Njem

Mgbe Jizọs na nwaanyị ahụ nọ n'olulu mmiri ahụ na-akparịta ụka, Jizọs kwere ya nkwa dị mkpa. Jisus zara, si ya:

> Onye ọ bula nke nāṅu miri a, akpiri gākpọ ya nku ọzọ: 14ma onye ọ bula nke gāṅu miri ahu nke Mu onwem gēnye ya, akpiri agaghi-akpọ ya nku ma-ọli rue mḅe ebighi-ebi; kama miri ahu nke Mu onwem gēnye ya gāghọ nime ya isi-iyi miri nāsuputa ri nne rue ndu ebighi-ebi (Jọn 4:13-14).

N'agbanyeghị ihe ọzọ nwanyị Saịka ghọtara site na nke a, ọ ghọtara otu ihe. Ọ ghọtara na Jizọs na-enye ya mmiri nke ga-eme ka akpịrị ghara ịkpọ ya nkụ ruo mgbe ebighị ebi. Nzaghachi ya gosipụtara nke a n'ụzọ doro anya: "Onye-nwe-ayi, nyem miri a, ka akpiri we ghara ikpọm nku, ka m'ghara kwa isi n'ogologo uzọ a nile bia ebe a isere miri." (Jọn 4:15).

O yikarịrị nnọọ ka e nwere ugbu a ihe ịkwa emo na olu ya. O dokwara anya na ọ ghọtabeghị ihe onyinye a pụtara n'ezie. Ihe Jizọs na-agwa nwaanyị ahụ abụghị olulu mmiri ahụ ma ọ bụ ụdị mmiri dị n'olulu mmiri ahụ.

Ma, ọ dịkarịa ala, o mere ka otu ihe doo ya anya. Ihe ọ bụla mmiri a bụ, ọ dị ya mkpa ịṅụ ya nanị otu ugboro. Ọ bụrụ na ọ bụ nke anụ ahụ, dị ka ihe dị n'olulu mmiri ahụ dị ya n'ihu, ọ dịghị mgbe ọ ga-alaghachi n'olulu mmiri a ọzọ. A gaghị enwe nlọghachi njem.

N'akụkụ ahụkwa, o kwuru eziokwu. N'eziokwu, mmiri ahụ Jizọs nyere ya bụ mmiri ime mmụọ na nke karịrị ike mmadụ, ma isi ihe ọ na-ekwu bụ otu ihe ahụ. Mgbe ọ ṅụsịrị mmiri ahụ o nyere ya, ọ dịghịzi mkpa ka ọ bịa rịọ ya ka o nye ya mmiri a ọzọ.

Otú ọ dị, ọ bụ ihe ijuanya na a na-elegharakarị eziokwu a dị mfe anya na chọọchị ndị Kraịst. N'ezie, e nwere ọtụtụ ndị na-agọnahụ eziokwu a. Kama nke ahụ, ha na-ekwusi ike na mmiri nke ndụ a pụrụ ifu site n'inupụ isi n'ụzọ dị oké njọ ma ọ bụ site n'ịhapụ okwukwe. Onye nweburu ya, pụrụ ịchọ inweta ya ọzọ. Ma, site n'ikwu otú ahụ, ha na-emegide Onyenwe anyị n'onwe ya.

Ma ndị ọzọ anaghị ekwu nke a n'ụzọ doro anya. Ihe ha na-ekwu, n'ezie, bụ na ịṅụ mmiri ahụ ga-aga n'ihu. Ha na-agbakwụnye na ọ bụrụ na ịṅụ mmiri ahụ akwụsị, na ọ dịghị mgbe ọ malitere n'ezie! Ma mgbagwoju anya dị ukwuu ebe a. A na-eleghara ịdị mfe nke ihe Onye Nzọpụta na-enye anya kpam kpam.

A na-ahụkarị echiche ahu a ka kpọtụrụ aha na usoro nzọpụta dabeere na ọrụ. Dị ka ụfọdụ ndị na-akwado ya si kwuo, ọ bụrụ na mmadụ "nwere okwukwe n'ezie," ha ga-anọgide na-ekwere ruo ọgwụgwụ nke ndụ. Ọ bụrụ na okwukwe adaa, ọ bụghị ezi okwukwe site ná mmalite.

Echiche a adịghị n'ebe ọ bụla na Baịbụl. Ka o sina dị, e nwere ọtụtụ ndị ozizi a gbagwojuru anya. N'ihi ya, ọ dị mkpa ka anyị lerukwuo okwu Onye Nzọpụta ahụ anya.

*Onyinye Ebighị Ebi*

Mkparịta ụka ahụ e nwere n'olulu mmiri Saịka dabeere ná nkwurịta okwu e nwere banyere onyinye. Dị ka Jisọs si kwuo, ọ bụ nke Ọ ga-eji obi ụtọ nye nwanyị ahụ ma ọ rịọ ya (Jọn 4:10).

Ma ọ bụ n'ụdị inye onyinye na, ozugbo e nyere onyinye ahụ, ọ dị n'aka onye natara ya. Nanị otu ihe e mere nke gụnyere inye ihe na ịnara ihe ezuola ime ka mgbanwe ahụ mee.

Ọ bụ ya mere ihe atụ nke ịṅụ mmiri ji doo nnọọ anya n'akụkọ Baịbụl ahụ. Jizọs nwere mmiri ahụ. Ọ na-enye nwanyị Sameria ahụ mmiri ka ọ ṅụọ, ọ ga-abụkwa nke ya ruo mgbe ebighị ebi. N'ezie, ọ na-agbanwe ya n'ime. Site n'oge ahụ gaa n'ihu, ọ ga-enwe isi iyi dị n'ime, ma ọ bụ "isi iyi", nke mmiri ya na-adịghị agwụ agwụ dị ka mgbe ebighị ebi n'onwe ya.

N'ebe a kwa, anyị na-ahụ ọrụ ebube nke ịmụgharị ihe. Okwu Chineke nke na-enye ndụ na-agbanwe mmadụ n'ime mgbe e ji okwukwe nakwere ya. Nkwado ahụ na-ewere ọnọdụ n'otu oge - ọ dị ka ingụ mmiri. Ma mmetụta nke ihe ọṅụṅụ ahụ adịghị agwụ agwụ.

Ma ọ bụ, n'ikwu ya n'ụzọ ọzọ, A na-enye mmiri nke ndụ otu ugboro, ọ na-anọgidekwa n'ime mmadụ ruo mgbe ebighị ebi. Ọ bụ onyinye ebighị ebi!

N'ezie, ọ bụghị nanị n'akụkọ banyere nwanyị Sameria ka anyị na-ahụ echiche a. Anyị na-ahụ ya ugboro ugboro n'oziọma nke anọ, ma n'okwu ndị Jizọs kwuru kpọmkwem ma n'ihe atụ ndị o ji mee ihe banyere nzọpụta. Dịka ọmụmaatụ, na mkparịta ụka abalị Ya na Nikọdimọs, Onyenwe anyị kwuru nke a: "N'ezie, n'ezie, asi mi, Ọ buru na amughi madu ọzọ, ọ pughi ihu ala-eze Chineke anya." (Jọn 3:3). Anyị kwesịrị ichebara okwu a a ma ama echiche nke ọma.

Ọ bụ ihe ijuanya otú nke a si enye otu eziokwu ahụ a na-achọta n'ihe oyiyi dị nnọọ iche nke ịṅụ mmiri. Ọmụmụ bụkwa ihe na-eme nanị otu ugboro ma nwee ihe ndị na-adịgide adịgide na-esi na ya apụta. N'ezie, ọ dịghị ụzọ ọ bụla anyị pụrụ isi gbanwee ọmụmụ a mụrụ anyị n'anụ ahụ́.

Ọbụna mmadụ igbu onwe ya adịghị eme ka ọ kwụsị n'ezie. Ọ bụ ezie na ọnwụ na-akwụsị ndụ anụ ahụ anyị dị ka anyị si mara ya ugbu a, Ọnwụ bụ mgbanwe, ọ bụghị ọgwụgwụ. Ọzọkwa, ndị nile nwụrụ anwụ ga-enwetaghachi ahụmahụ anụ ahụ ọzọ.

Ya mere, site n'ọmụmụ anụ ahụ, m na-abanye n'ihe Chineke kere dị ka onye na-adịru mgbe ebighị ebi. Anọ m ebe a ruo mgbe ebighị ebi. Ọ dịghị ihe ọ bụla m pụrụ ime banyere nke ahụ.

Ọ dịghịkwa ihe m nwere ike ime banyere ọmụmụ ọhụrụ ozugbo m nwetara ya. Site n'ọrụ ebube ahụ dị ịtụnanya, a họpụtawo m ịbụ nwa Chineke. Ọ bụrụgodị na m ekpebie na achọghị m ịbụ nwa Ya, ọ gaghị abara m uru. Ọmụmụ ime mmụọ m, dị ka nke anụ ahụ m, bụ nke a na-apụghị ịgbanwe agbanwe.

Otú ọ dị, a tụwo aro na, ọ bụ ezie na enweghị m ike ifunahụ nzọpụta m, apụrụ m inyeghachi ya. Ma nke a bụ ihe nzuzu. Apụghị m inyeghachi Chineke ọmụmụ ime mmụọ m dị nnọọ ka m na-enweghị m uke inyeghachi ndị mụrụ m nọ n'ụwa ọmụmụ anụ ahụ́ m. Ọ bụrụ na m nwere ike, nkwa ndị dị n'Oziọma Jọn ga-abụ ụgha. N'ọnọdụ ahụ, onye kweere n'Ọkpara Chineke ga-ala n'iyi, na-emegide Jọn 3:16. Onye nwere ndụ ebighị ebi ga-abata n'ikpe, na-emegide Jọn 5:24. Ma ọ bụ, dị ka anyị chọpụtaburu, ọ bụrụ na mmadụ aṅụ mmiri ahụ Jizọs nyere ya, akpịrị ga-akpọ ya nkụ ọzọ. Ma ahụmahụ nile dị otú ahụ agaghị ekwe omume nye onye nwere okwukwe. Jizọs n'onwe ya kwuru otú ahụ.

Okwu ahụ dị ike e dekọrọ na Jọn 5:25 nwekwara mmetụta yiri nke ahụ. N'ebe ahụ, Jizọs kwuru, sị: "N'ezie, n'ezie, asim unu, Oge hour nābia, ubu a ka ọ di kwa, mbe ndi nwuru anwu gānu olu Ọkpara Chineke; ndi nuru gādi kwa ndu." Ọzọkwa, anyị na-ahụ ihe atụ dị irè nke ọrụ ebube nke ịmụ mmadụ ọzọ. Na nke ugbu a, e ji ọrụ ebube ahụ tụnyere mbilite n'ọnwụ n'onwe ya.

N'amaokwu bu ụzọ Jizọs kwuru maka ndị kwere ekwe dịka ndị "si n'ọnwụ ba na ndu" (Jọn 5:24). Anyị nwere ike ịna-eche, sị: 'Olee otú ụdị ihe a si eme? Amaokwu nke 25 zara ajụjụ a. Jizọs na-ekwu na oge awa ahụ eruola, bụ́ mgbe a ga-akpọlite ndị nwụrụ anwụ n'ụzọ ime mmụọ

ná ndụ ime mmụọ. Na ngwá ọrụ dị irè n'ime mbilite n'ọnwụ ahụ bụ olu nke Ya - Okwu Okwu Ya na-eweta ndụ.

N'ụzọ doro anya, n'ebe a kwa, anyị na-ahụ ihe oyiyi nke kwekọrọ n'ụzọ magburu onwe ya n'ihe oyiyi nke ịmụ mmadụ ọzọ, ma ọ bụ nke otu ihe ọṅụṅụ na-adịgide adịgide. N'ihi na mbilite n'ọnwụ bụ ihe a na-apụghị ịgbanwe agbanwe dị ka ọmụmụ. Ọ bụ ihe mere nanị otu ugboro, nke nwere nsonaazụ ebighị ebi. Otú ahụ ka ọ ga-adị ndị nile a ga-akpọlite n'ọnwụ n'ọdịnihu. Mbilite n'ọnwụ ha ga-abụ otu ahụmahụ nke ga-adịru mgbe nile ebighị ebi.

Nke ahụ bụkwa maka ndị nile a kpọlitere ugbu a site n'ịnụ okwu nzọpụta Chineke n'okwukwe. Ihe mbilite n'ọnwụ a rụpụtara adịghị agwụ agwụ.

Mgbe ahụ, ọ bụghị ihe ijuanya na isiakwụkwọ na-esonụ nke Jọn mesiri ike otú ọrụ nzọpụta ahụ si bụrụ nke na-adịgide adịgide. Anyị na-anụ ya n'ụzọ doro anya, dị ka ihe atụ, n'okwu ndị a: "Mu onwem bu nri nēnye ndu: onye nābiakutem, agu agaghi-agu ya ma-ọli, onye nēkwere kwa na Mu akpiri agaghi-akpọ ya nku ma-ọli mḅe ọ bula." (Jọn 6:35). ""Agụụ agaghị agụ ya" "akpiri agaghi-akpọ ya nku ma-ọli" ! Ihe Jizọs na-ekwu bụ: "Ọ bụ nke na-adịgide adịgide! Ọ bụ ihe na-adịgide adịgide!

Mana Ọ kwukwara ya ọzọ ozugbo: "Ihe nile nke Nnam nēnyem gābiakutem; onye nābiakutekwam M'gaghi-achupu ya ma-ọli." (Jọn 6:37). "M'gaghi-achupu ya ma-ọli" "Ọ bụ nke na-adịgide adịgide!"

Ọ na-ekwukwa ya ọzọ:

> "N'ihi na esiwom n'elu-igwe ridata, ọ bughi ka M'nēme ihe Mu onwem nāchọ, kama ka M'nēme ihe Onye ziterem nāchọ. Ma nka bu ihe Onye ziterem nāchọ, ka M'ghara itufu ihe ọ bula nime ihe nile O nyeworo m, kama ka M'me ka o si n'ọnwu bilie n'ubọchi ikpe-azu. (Jọn 6:38-39).

Ka ihe ọ bụla ghara ịla n'iyi n'ime ihe nile Nna nyere Ya!" "Bulite ya n'ụbọchị ikpeazụ!" "Ọ bụ nke na-adịgide adịgide!"

Ọzọkwa: N'ihi na nka bu ihe Nnam nāchọ, ka onye ọ bula nke nēle Ọkpara-Ya anya, nke nēkwere kwa na Ya, we nwe ndu ebighi-ebi; Mu onwem gēme kwa ka o si n'ọnwu bilie n'ubọchi ikpe-azu. (Jọn 6:40)

Ka a sịkwa ihe mere Onye Nzọpụta ahụ ji mesie Mata obi ike na Ya bụ ma Mbilite n'Ọnwụ ma Ndụ nye onye ọ bụla kwere

ekwe. A na-ekwe nkwa ihe ndị ahụ kpam kpam. Ha bụ akụkụ dị mkpa nke nkwa ahụ Jisọs kwere n'inye nzọpụta Ya. A ga-enye onye ọ bụla kwere ekwe mbilite n'ọnwụ n'ụbọchị ikpeazụ. Ahụmahụ onye kwere ekwe na ndụ Chineke, nke na-amalite ugbu a, ga-aga n'ihu n'ime ọtụtụ afọ ndị na-esote.

Mgbe ahụ, ndụ ebighị ebi abụghị nanị onyinye. N'ezie, ọ bụ onyinye na-adịru *mgbe ebighị ebi.*

*Ihe a na-eji eme ihe ruo mgbe ebighị ebi*

okwukwe nke na-anara onyinye ahụ bụ nke doro anya ma bụrụ nke ikpeazụ. Nke a, kwa, doro anya site n'ihe atụ Jizọs ji kọwaa nkenye a.

Ka anyị cheta ọzọ na mgbe Onyenwe anyị na-agwa nwanyị ahụ si Saịka okwu, Ọ kọwara mgbanwe Ọ na-enye n'ụzọ nke inye na ịnata mmiri ọṅụṅụ. Nke a abụghị maka ịṅụ ya ọtụtụ oge. A naghị agwa nwanyị ahụ ka ọ ṅụọ ma ṅụọ ọtụtụ oge.

[1] A na-agwa ya ka ọ ṅụọ - otu ugboro maka mgbe niile!

N'ezie, nke a bụ nnọọ ihe dị iche na mmiri dị n'olulu mmiri ahụ Onyenwe anyị Jizọs Kraịst nọ n'elu ya. Onye ọ bụla ṅụrụ mmiri ahụ ga-aṅụ ya ugboro ugboro (Jọn 4:13). Ma ọ bụghị otú ahụ ka mmiri ahụ Jizọs nyere dị (Jọn 4:14). A gaghị aṅụ mmiri Ya ọzọ ma ọlị. Ihe ọṅụṅụ mbụ ahụ zuru ezu n'ihi na ihe ọ rụpụtara na-adịgide adịgide.

Ọ bụ n'ebe a ka anyị pụrụ ịmata ajọ adịghị ike dị n'ọtụtụ echiche ndị na-ezisa ozi ọma taa. N'ilekwasị anya nke ukwuu na "ọdịdị" nke okwukwe, anyị echefuola ihe Akwụkwọ Nsọ na-ekwu banyere onyinye nke okwukwe na-enweta.

A sị ka e kwuwe, ịṅụ mmiri bụ naanị ụzọ isi ruo ihe mgbaru ọsọ. Ọ bụ mmiri n'onwe ya dị mkpa, ọbụna n'ọkwa anụ ahụ. Ọ bụrụ na mmiri m na-aṅụ bụ mmiri nnu, ọ baghị uru otú m si nwee nkà ma ọ bụ ruo eruo n'ịṅụ ya. Mmiri dị otú ahụ agaghị eme ka akpịrị ịkpọ nkụ m n'ụzọ anụ ahụ kwụsị.

Ma ọtụtụ ndị na - ekwusa ozi ọma ekwetaghị ihe Baịbụl kwuru. N'Akwụkwọ Nsọ, okwukwe na-azọpụta ndụ bụ okwu dị mfe ma bụrụ nke na-adịghị agbagwoju anya. Anyị atụleworị eziokwu a n'isiakwụkwọ ndị bu ụzọ.

Ma mmiri nke ndụ n'onwe ya adịghị mfe. N'ezie, ọ bụ ihe karịrị ike mmadụ. Ihe ndị ọ na-arụpụta dị ebube, dị omimi, ma na-adịru mgbe ebighị ebi. N'agbanyeghị nke ahụ, okwukwe nke na-anata onyinye dị ukwuu otú ahụ na-egosipụta nnọọ obi ike yiri nke nwatakịrị.

N'ezie, Jisos n'onwe ya kwusiri ike, "N'ezie asim unu, Onye ọ bula nke nāgaghi-anara ala-eze Chineke dika nwatakiri, ọ gaghi-abà nime ya ma-ọli." (Luk 18:17).

N'ihi ya, a ga-azọpụta ndị ga-eji obi dị ọcha nabata ya.

Otu nghọta a doro anya banyere nzọpụta na-ezute anyị ọzọ n'akụkụ Akwụkwọ Nsọ ahụ anyị tụlerela: "N'ezie, n'ezie, asim unu, Oge hour nābia, ubu a ka ọ di kwa, mbe ndi nwuru anwu *gānu* olu Ọkpara Chineke; ndi nuru gādi kwa ndu" (Jọn 5:25 agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche).

N'ụzọ dị nnọọ mfe, Onyenwe anyị na-ahụta olu Ya dị ka ike dị ukwuu nke pụrụ iru ntị nke ndị nwụrụ anwụ n'ụzọ ime mmụọ. Ma ozugbo o mere otú ahụ, ọ na-ekwupụta, ndị nwụrụ anwụ abụghị ndị nwụrụ anwụ ọzọ. N'ezie, ha ebilitewo n'ọnwụ.

N'ihi ya, o doro nnọọ anya na 'ịṅụ' nke Jizọs na-ekwu banyere ya n'ezie bụ ịnara Okwu Chineke nke na-enye ndụ site n'inwe okwukwe. Ma ozugbo a nụchara ya, ndụ ebighị ebi na-amalite. Echiche ọ bụla ọzọ ma e wezụga ihe omume dị mfe adabaghị na ihe atụ a ma ọlị. A na-anụ Okwu Chineke n'okwukwe. Ihe si na ya pụta bụ ndụ ebighị ebi.

Dị ka o kwesịrị ịdị, a na-ahụ eziokwu a n'ihe atụ nke mbilite n'ọnwụ Lazarọs. Lazarọs nwụrụ anwụ n'ezie! Nwanne ya nwanyị bụ Mata achọghị ka ewepụ nkume n'ọnụ ili ya n'ihi ísì ọjọọ nke ga-esi na ya pụta (Jọn 11:39).

Ma Onyenwe anyị Jizọs Kraịst, onye bụ mbilite n'ọnwụ na ndụ nye onye kwere ekwe ọ bụla (Jọn 11:25-26), ọnọdụ Lazarọs na-enweghị ndụ egbochighị ya. Kama nke ahụ, ọ na-eji okwu ndị a "Lazarọs, pụta!" "Ọ banyere n'ime ntị ndị ahụ nwụrụ anwụ, olu Ya mekwara ka nwoke a dịghachi ndụ.

Ọ bụ nnoo ihe dị mfe. "Lazarọs, pụta!" (Jọn 11:43) Okwu ndi a dị kpọmkwem, doro anya, ma dịkwa irè. Lazarọs nụrụ okwu ndị a *otu ugboro*, nke ahụ zuokwara. Malite n'oge ahụ ọ nwụrụ ha, ọ dịrị ndụ.

Otú ahụ ka ọ dịkwa n'ihe banyere inweta onyinye nzọpụta Chineke nyere anyị. a na-aṅụ ya otu ugboro, ọ bụ ịnụ olu Ọkpara ahụ otu ugboro, na-eme ka e nwee ọrụ ebube dị ịtụnanya, nke a na-apụghị ịgbanwe agbanwe nke ịbụ onye a mụrụ ọzọ.

Olee otú anyị pụrụ isi chewe echiche banyere ya n'ụzọ ọzọ?

N'ihi ya, ọ bụghị ihe ijuanya ịchọpụta ụkpụrụ a kpọmkwem n'okwu kasị ukwuu Baịbụl kwuru banyere nzọpụta. N'ihi na, Jọn 3, mgbe Onyenwe anyị zutere onye Farisii na-ajụ ase aha ya bụ Nikọdimọs, O mere ka eziokwu anyị na-ekwu banyere ya doo anya n'ụzọ na-enweghị nkọcha.

N'ezie, tupu Jizọs ekwuo okwu ndị ahụ magburu onwe ha dị na Jọn 3:16, ọ gwara Nikọdimọs, sị:

> "Ma dika Moses weliri agwọ n'ọhia, ọbuná otú a aghaghi iweli Nwa nke madu elu: ka onye ọ bula nke kwere we nwe ndu ebighi-ebi na Ya." (Jọn 3:14 – 15).

Mmalite a siri ike dị oke mkpa n'ihi na ọ na-eduga n'amaokwu kachasị ike banyere nzọpụta.

Ọ dịghị onye pụrụ ịkọwa ọnụ ọgụgụ mmadụ a na-apụghị ịgụta ọnụ bụ́ ndị nwetaworo ndụ ebighị ebi site na Jọn 3:16. N'ezie, Jizọs maara mgbe O kwuru okwu ndị a na ha ga-amị ụdị mkpụrụ a bara ụba. N'ihi ya, O ji ihe atụ dị nnọọ irè banyere nzọpụta mee ihe.

N'ime otú ahụ, Jizọs gwara Nikọdimọs banyere otu akụkọ dị n'Agba Ochie nke dị Ọnu-Ọgugu 21:4-9.

N'ebe a, ụmụ Izrel tamuru ntamu megide Chineke na Mozis. N'ihi mmehie a ha mere, agwọ na-ere ọkụ na-egbu egbu, bụ́ ndị na-egbu egbu, tara ha. Ma mgbe ndị Izrel rịọrọ Mozis ka o kpee ekpere maka ha, o mere otú ahụ. (Ọpupu 21:7).

Mgbe ahụ, n'ịgbaso ntụziaka sitere n'aka Chineke, Moses rụrụ "agwọ ọla [bronz], tukwasi ya n'ọkọlọtọ ahu" (Ọnu-ọgugu 21:9) Ọ bụ Chineke n'onwe ya gwara Moses na ozugbo o mere nke a "onye ọ bula ataworo gādi ndu, mḅe ọ huworo ya anya." (Ọnu-ọgugu 21:8). Nke ahụ bụkwa kpọmkwem ihe merenụ, nke mere na anyị na-agụ, sị: "o rue, ma ọ buru na agwọ atawo madu, na ọ di ndu, mḅe ọ legidere agwọ ọla ahu anya" (Ọnu-ọgugu 21:9).

Nke a bụ ụzọ mara mma ma dị mfe isi gosi otú okwukwe na-azọpụta ndụ dị! Dika Moses weliri agwọ ọla n'ọzara, otu a ka aghaghi ibuli Okpara Chineke elu n'elu obe nke Calvary. Ya mere, ebe ọ bụ na Chineke họpụtara Jizọs ka ọ zọpụta ndị mmadụ n'aka mmehie, onye ọ bụla nke nwere okwukwe na Ya - dị nnọọ ka ndị Izrel oge ochie - nwere ike inweta ndụ ozugbo.

Otu nle anya na-eweta ndụ ebighị ebi. Ọ̀ dị ihe ga-adị mfe karịa nke ahụ? N'ụzọ doro anya, ọ bụghị banyere ile anya ugboro ugboro. Dị nnọọ ka otu iko mmiri na-enye ndụ zuru ezu, otu ilegide anya n'okwukwe ezuwokwa.

O nwere ike iju ụfọdụ ndị anya taa na ọ dị mfe ime otú ahụ.[2] Ma anyị aghaghị icheta na ọ bụ ọrụ ebube sitere n'aka Chineke. Chineke adịghịkwa achọ ka e dozie ihe nile n'ụzọ dị mgbagwoju anya iji rụọ ọrụ ebube Ya.

N'ezie, Nanị ịtụkwasị Kraịst obi na-eme ka ọrụ ebube Chineke dịkwuo ukwuu. N'ihi na n'oge ahụ kpọmkwem mgbe nwoke ma ọ bụ nwanyị kweere na Kraịst, n'oge ahụ, ebighi ebi n'onwe ya na-awakpo ahụmịhe mmadụ ma na-agbanwe ọdịdị ime anyị ka ọ bụrụ ihe ọhụrụ dị ebube na nke na-adịgide adịgide.

Lee ka onye dere abụ si kọwaa eziokwu a nke ọma mgbe ọ sịrị:

> A Mụrụ site na Mmụọ, na ndụ sitere n'elu
> N'ime ezinụlọ Chineke dị nsọ;
> A gbagharara m mmehie kpamkpam site n'ịhụnanya Kalvarị,
> Lee ka ọnọdụ m si dị ebube!
> A rụkwara ọrụ ahụ ngwa ngwa,

Mgbe m bịara dị ka onye mmehie,

Nara onyinye amara O nyere,
O zọpụtara m, O, too aha ya dị ebube!

Eluigwe rịdatara ma ebube jupụta mkpụrụ obi m,
Mgbe n’obe Onye Nzọpụta mere ka m dị mma;
A sachapụla mmehie m niile
Ma abalị m gbanwere ghọọ ehihie—
Eluigwe rịdatara ma ebube jupụta mkpụrụ obi m!
— John W. Peterson
*Eluigwe rịdatara*

Ka a ghara inwe mgbagwoju anya banyere ya. Bible na-akụzi kpọmkwem ụdị mgbanwe a dị ebube.

*Mmechi*

Nkọwa Baịbụl na-enye banyere nzọpụta bụ ihe magburu onwe ya n'ụzọ doro anya na n'ụzọ dị mfe. Nanị iji onyinye Chineke mee ihe otu ugboro na-arụpụta mgbanwe dị ebube n'ime mmadụ bụ́ nke a na-apụghị ịgbanwe agbanwe.

Ebe nke a bụ eziokwu, anyị ekwesịghị isi ọnwụ na ezi okwukwe nke na-azọpụta ndụ aghaghị ịdịgide mgbe nile. N'ezie, anyị kwesịrị ịnọgide na-enwe okwukwe na Kraịst. Ma ọ dịghị ebe ọ bụla Baịbụl kwadoro echiche ahụ bụ́ na ọ ghaghị ịnọgide na-adịgide adịgide, ma ọ bụ na ọ na-adịgide adịgide. Anyị ga-amụtakwu banyere nke a n'isiokwu ndị na-esonụ.

Ka ọ dị ugbu a, o zuru ezu iburu n'uche na Baịbụl na-akụzi na nzọpụta na-abịa site n'okwukwe, ọ bụghị site n'ịnọgide na-enwe okwukwe. Dị nnọọ ka ịmụ mmadụ ọzọ na-ewere ọnọdụ n'oge a kapịrị ọnụ maka onye ọ bụla, otú ahụ ka okwukwe na-azọpụta na-adị.

Ọ bụ ya mere, n'ihe banyere Abraham, e ji dee oge a ga-agụ ya n'onye ezi omume n'akụkọ ihe mere eme. O mere kpọmkwem n'ọnọdụ akụkọ ihe mere eme a kọwara na Jenesis 15, ebe anyị na-agụ banyere ya. “'Ọ we kwere na Jehova; Ọ we gua ya nye ya n'ezi omume.” (Jenesis 15:6)

Ya mere, dị ka ihe ndekọ Bible si kwuo, ọ bụ n'oge a - na nanị n'oge a - ka e ji okwukwe kpọọ Ebreham onye ezi omume. Okwu ahụ dị na Jenesis 15:6 pụrụ nnọọ iche n'ihe ndekọ Akwụkwọ Nsọ. Ọ dịghị ebe ọzọ a na-ahụ ihe yiri ya n'akụkọ sitere n'ike mmụọ nsọ nke ndụ onyeisi ezinụlọ ahụ.

Anyị ekwesịghịkwa ịtụ anya na ọ ga-adị. A sị ka e kwuwe, ma igosi na mmadụ bụ onye ezi omume ma ịmụ mmadụ ọzọ bụ ihe ndị a na-apụghị imeghachi ọzọ, dị nnọọ ka okwukwe nke na-eme ka mmadụ nweta ha. Ihe omume abụọ ahụ na-eme n'otu oge maka Onye Kraịst ọ bụla, na oge ahụ pụrụ iche n'akụkọ ihe mere eme bụkwa oge nzọpụta nke okwukwe.

Site n'mgbapụta anyị na-enweta *ezi omume* nke Chineke, nke a na-agụnyere anyị na ndabere nke okwukwe naanị (Ndị Rom 3:21-22). Site na mmụgharị, anyị na-enweta *ndụ* Chineke n'onwe ya, bụ́ nke a na-enye anyị n'otu aka ahụ site n'okwukwe nanị. N'ihi ya, n'oge na-adịghị anya, a na-anabata anyị n'ụzọ zuru okè n'ihu ụlọikpe ikpe ziri ezi nke Chineke, anyị na-aghọkwa ndị òtù ezinụlọ Ya n'ụzọ zuru ezu.

Ihe a niile bụ n'efu ma bụrụkwa ihe na-adịgide adịgide.”N'ihi na nchèghari adighi n'onyinye-amara nile na ọkpukpọ nke Chineke” (Ndi Rom 11:29).

E nweghị njem ịlaghachi azụ.

# Isi nke 6

# Ụbọchị Ndị Anyị Nọ n'Ụlọ Akwụkwọ

Ọ bụ nanị okwu ole na ole Jizọs kwuru bụ́ ndị dị omimi ma ọ bụ na-akpali akpali karịa ndị o kwuru banyere ịbụ onye na-eso ụzọ, bụ́ ndị o kwuru otu ụbọchị n'ihu ìgwè mmadụ. Dị ka Luk si kwuo, Onyenwe anyị gwara ìgwè mmadụ a ihe ndị na-esonụ: 'Ọ buru na onye ọ bula abiakutem, ma ọ kpọghi nna nke ya asì, ya na nne nke ya, na nwunye nke ya, na umu nke ya, na umu-nne-ndikom nke ya, na umu-nne-ndinyom nke ya, e, ndu nke aka ya kwa, ọ pughi ibu onye nēso uzọm.' (Luk 14:26).

N'ezie, Jizọs bụ onye nkụzi bụ́ onye rabaị na-ejegharị ejegharị. Ndị Gris na Rom oge ochie maara ụdị onye a nke ọma. Ọbụna mpụga Palestaịn, ndị ọkachamara n'ihe banyere nkà ihe ọmụma, nkà ikwu okwu, ma ọ bụ n'akụkụ ihe ọmụma ndị ọzọ, si n'otu ebe gaa n'ebe ọzọ na-akpata ihe ha ji ebi ndụ site na ozi ndị ha na-ịgbasa.

Ọ dịghị onye tụrụ anya na ntụziaka dị otú ahụ ga-abụ n'efu. A sị ka e kwuwe,, onye nkụzi, ma ọ bụ ọkà ihe ọmụma, aghaghịkwa iri nri. Ya mere, ọnụ ahịa ọzụzụ ọ na-enye bụ ajụjụ na-adị mkpa mgbe niile. Gịnị ka ọ ga-efu ịghọ nwa akwụkwọ ya?

N'ezie, nke ahụ bụ kpọmkwem ihe “onye na-eso ụzọ” bụ. Okwu Grik mbụ e ji mee ihe n'ebe a pụtara nwa akwụkwọ, onye na-amụta ihe. Ihe okwu okpukperechi siri ike nke okwu 'onye na-eso

ụzọ' nwere taa n'asụsụ Bekee adịghị adị nye ìgwè mmadụ ahụ nụrụ Jizọs ka ọ na-ekwu okwu ndị anyị na-atụle.

N'ezie, Jizọs kụziri okpukpe, ma ọ bụ, n'ụzọ ziri ezi karị, ụzọ ndụ. Nsogbu okwu Ya na-edozi dị mfe.: Gịnị ka ntụziaka m ga-efu gị?

O doro anya na ozizi Onyenwe anyị ziri n'ihu ọha metụrụ ọtụtụ ndị n'ime ìgwè mmadụ ahụ n'ahụ́. Ọ ghaghị ịbụ na ụfọdụ n'ime ha nọ na-eche ma hà ga-achọ ịghọ ndị na-eso ụzọ Ya kwa ụbọchị, ma soro Ya na-eme njem iji rite uru zuru ezu site n'ozizi Ya. Olee otú ọ ga-adị gị ịnọ 'n'ụlọ akwụkwọ' n'okpuru Onye Nkụzi a?

Azịza nke Onyenwe anyị nye ajụjụ ha bụ ihe na-eju anya. 'Ọ bụrụ na ịkpọghị ezinụlọ gị asị,' O kwuru, 'nakwa ọbụna ndụ nke gị , ị pụghị ịbụ onye na-eso ụzọ m.'

Ugbu a, o doro anya na okwu ndị a na-atụnye ọnụ ahịa dị elu n'ịbụ onye na-eso ụzọ. Ikwu ihe dị iche bụ ileghara ihe doro anya ha pụtara.

Ma n'otu aka ahụ, o kwesịrị ido anya na ha *enweghị ihe jikọrọ ya* na usoro anyị si enweta ndụ ebighi ebi. Ekwesighịdị ikwu nke ahụ. Otú ọ dị, ọ dị mwute ikwu na ọ dị mkpa ikwu ya n'ime chọọchị nke oge a. N'ezie, ọ bụ otu n'ime mmejọ ndị dị mkpa nke ozizi nzọpụta dabeere na ọrụ na ọ na-agụ okwu Jizọs banyere ịbụ onye na-eso ụzọ dị ka a ga-asị na ha adịghị iche na okwu ndị ahụ Ọ gwara nwanyị Sịka banyere mmiri nke ndụ.[1]

Mmadụ pụrụ ịjụ, sị, “Olee otú mmadụ ga-esi mee ụdị njehie a? Ọbụna nwatakịrị pụrụ ịhụ na ịbụ onye na-eso ụzọ Jizọs siri ike, ma ndụ ebighị ebi bụ onyinye e nyere n'efu. Ọ̀ dị onye pụrụ iche n'echiche na Luk 14:26 na-ekwu n'ezie otu ihe ahụ dị ka Mkpughe 22:17, “onye nāchọ, ya nara miri nke ndu ahu n'efù”?

N'agbanyeghị nke ahụ, ndị na-agbaso echiche nzọpụta dabere na ọrụ na-eche echiche banyere nke a ma na-agbagwoju ọtụtụ ndị anya site n'ịkụzi ya. Ma ọ dịghị onye pụrụ ịghọta Agba Ọhụrụ ma ọ bụrụ na ọ hụghị ihe dị iche doro anya dị n'etiti onyinye nke ndụ na ịbụ onye na-eso ụzọ Jizọs Kraịst.

N'ezie, ileghara ọdịiche a dị oké mkpa anya ga-eme ka e nwee mgbagwoju anya na ozizi ụgha nke ndị kasị njọ. N'ihi nke ahụ, anyị aghaghị iji nlezianya dị ukwuu leba anya n'ọdịiche a dị mkpa.

*Ịtọlite*

Nna, onye ka kuuru nwa ya nwoke amụrụ ọhụrụ n'aka, ekwesịghị ka a gwa ya na nwa ya dị ndụ. Obi dị ya ụtọ n'ihi eziokwu ahụ.

Ma ọ maara na nwa ya nwoke enweghị ike ime ihe ọ bụla n'onwe ya. Nwa ọhụrụ ahụ o ku n'aka jupụtara ná ndụ ma nwee ọtụtụ ikike ndị a na-egosibeghị. Ọtụtụ nlekọta na ọzụzụ dị n'ihu.

Ọ bụghị nanị nke ahụ, kama ahụmahụ ụwa nke nwa a banyere na ya jupụtara ná nsogbu na ihe ize ndụ. Ụfọdụ n'ime ha bụ ihe ize ndụ nke ọrịa, nkwarụ, na mmerụ ahụ́. Ekwesighi iwere uto nke ọma dị ka ihe efu.

Baịbụl adịghịkwa ele uto ime mmụọ anya dị ka ihe na-apụtachaghị ìhè. Nke bụ́ eziokwu bụ na Okwu Chineke na-ekwu hoo haa banyere ihe ize ndụ ndị na-egbochi mmadụ inwe ọganihu ime mmụọ. Ọ bụ ya mere onye a kasị mara amara n'ime ụmụ akwụkwọ Onyenwe anyị, bụ́ Pita n'onwe ya, ji dee okwu ndị a:

> "Ya mere, tupunu ihe ọjọ nile, na aghughọ nile, na iru-abua, na ekworo, na nkwutọ nile di iche iche, dika umu amuru ọhu, ka agu miri-ara nke okwu Chineke, nke aghughọ nādighi ya, nāgusi unu ike, ka unu we were ya nētó etó rue nzọputa" (1 Pita 2:1-2).

Onyeozi ahụ kwuru na àgwà ụfọdụ na-emerụ ahụ́ nke Onye Kraịst, ma, e nwere otu ihe dị oké mkpa n'ime ha. Ụfọdụ n'ime nsí ndị a ga-ezere bụ obi ọjọọ, aghụghọ, ihu abụọ, anyaụfụ, na nkwutọ. Otú ọ dị, a na-achọta nri dị oké mkpa n'ime mmiri ara nke Okwu Chineke. Ma nsí a gwakọtara ya na mmiri ara pụrụ igbu mmadụ.

Taa, e nwere n'akụkụ ụfọdụ nke chọọchị ndị na-ezisa ozi ọma echiche na-abụghị nke ezi uche dị na ya banyere ọdịdị nke ahụmahụ ndị Kraịst. Ndị kweere n'echiche a na-ekwu na ihe ga-eme ka mmadụ bụrụ ezigbo Onye Kraịst bụ ma a mụọ ya ọzọ. Ma echiche a ekwekọghị na Baịbụl dị ka ebe ọwụwa anyanwụ si dị anya site n'ebe ọdịda anyanwụ.

N'ezie, ọ bụ eziokwu dị ebube na n'oge a mụrụ mmadụ ọzọ, a na-enye onye ahụ kwere ekwe ndụ Chineke n'onwe ya. Ma dị ka inye ndụ nke anụ ahụ n'onwe ya, a dịghị enye ndụ ime mmụọ n'ụdị zuru ezu. Ọ dịghị abịakwute anyị n'ọnọdụ a haziri ahazi.

N'ụzọ megidere nke ahụ, ndozogharị ohuru na-eweta ikike dị ukwuu na ohere ndị dị egwu. Ma ikike ndị a nile na-abịa, dị ka a pụrụ isi kwuo ya, ọ bụghị n'oge ha tozuru okè, kama n'ụdị "mkpụrụ" nke chọrọ ezi nlekọta.

Ọzọkwa, ọ bụ Pita na-akwado echiche a, n'ihi na ọ na-akọwa ndị na-agụ ya dị ka "ebe amuworo unu ọzọ, esiteghi na nkpuru apuru imebi, kama esitere na nke anāpughi imebi, site n'okwu Chineke, nke di ndu, nke nādigide kwa, mu unu ọzọ." (1 Pita 1:23)

N'ihi ya, a pụrụ ịkọwa ahụmahụ Onye Kraịst n'ụzọ kwesịrị ekwesị, dị ka a pụrụ isi kọwaa Pita, dị ka usoro nke ito eto. Ma n'otu aka ahụ, a pụkwara ịkọwa ya dị ka usoro izi ihe. N'ezie, n'asụsụ mbụ, okwu Pita, "mmiri-ara dị ọcha nke okwu Chineke" (1 Pita 2:2), na-eji okwu na-egosi na "mmiri ara" a jikọtara ya na akụkụ uche na nke ezi uche nke ahụmahụ mmadụ. N'ihi ya, ọ bụ Okwu *na-enye ọzụzụ*.[2]

Ọ dịghị nne ma ọ bụ nna maara ihe nke ga-ekwere na nwata na-etolite ma na-amụta ihe n'onwe ya. N'ụwa a, ọbụna uto anụ ahụ pụrụ ịbụ nke a na-egbochi, uto uche ma ọ bụ nke mmetụta uche nọkwa n'ihe ize ndụ ka ukwuu. Ọ ga-abụ nnọọ ihe ezi uche na-adịghị na ya iche na ndụ malitere n'onwe ya.

N'otu aka ahụ, Baịbụl na-agba ume ka a na-ele ihe anya n'ụzọ ezi uche dị na ya banyere nsogbu ndị na-eche uto nke ahụmahụ ime mmụọ n'ụwa nke mmehie jupụtara ihu. Otu n'ime ihe ndị na-egbochi ụdị ahụmịhe a bụ ahụ nke anụ ahụ nke e tinyere ndụ Chineke n'ime ya. Ọ bụ ya mere Pọl, n'okwu a na-eleghara anya nke ukwuu, nwere ike ide okwu ndị a: "Ma ọ buru na Kraist nọ nime unu, *aru-unu bu ihe nwuru anwu* n'ihi nmehie n'ezie; ma Mọ Nsọ bu ndu n'ihi ezi omume." (Ndị Rom 8:10, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche)

Ka anyị rịba ama na nke a bụ nkọwa nke onye Kraịst, onye Kraịst na Mmụọ Nsọ bi n'ime ya. Ma ụlọ nke anụ ahụ nke nwere ha nwụrụ anwụ n'ụzọ ime mmụọ!

Ka a sịkwa ihe mere Pọl ji si otu a ghọta ụdị ahụmahụ abụọ kwere omume maka onye kwere ekwe—Otu ụzọ bụ nke anụ ahụ́ na-achịkwa, nke na-eduga n'ọnwụ. Ụzọ nke ọzọ bụ mmụọ nke Kraịst, bụ́ nke na-enye ndụ. Pọl onyeozi mere ka ihe abụọ a doo anya: "N'ihi na asi na unu nādi ndu dika anu-aru si chọ, unu gaje inwu; ma ọ buru na unu nēwere Mọ Nsọ me ka omume aru nwua, unu gādi ndu" (Ndị Rom 8:13).

Nkwupụta a dị nnọọ mfe dị ka ọ na-ada. Chụsoo mmehie, ka Pọl na-adọ aka ná ntị, ahụmahụ gị ga-abụkwa nke kwekọrọ n'ọnwụ nke anụ ahụ gị.[3] Otú ọ dị, mee ka mmehie nwụọ, ahụmahụ gị ga-abụ nke Mmụọ dị ndụ n'ime gị.

N'ezie, Pọl maara ihe ụfọdụ banyere mgba siri ike nhọrọ ndị a pụrụ ịkpata, dị ka nkọwa o nyere banyere mgba ahụ na Ndị Rom 7:15-25 na-egosi n'ụzọ doro anya. E kwuru eziokwu a dị mkpa n'amaokwu ikpeazụ:

> Ya mere otú a mu onwem ji uchem buru orù nke iwu Chineke; ma ejim anu-arum buru orù nke iwu nmehie. (Ndị Rom 7:25)

Dị ka o kwesịrị ịdị, ọ bụ nanị onye a mụrụ ọzọ ka ọdịdị ime ya na-agbara iwu Chineke *ohu*, dị ka a pụrụ isi kwuo ya. Naanị onye amụrụ ọzọ nwere ike n'ezie "Iwu Chineke nēnwekọ obi-ụtọ dịka mmadụ imem si di" (Ndị Rom 7:22).

N'ụzọ dị iche, onye a na-amụbeghị ọzọ bụ onye nwụrụ anwụ n'ime njehie na mmehie, nghọta ya gbara ọchịchịrị, ma bụrụ onye e kewapụrụ na ndụ nke Chineke site n'amaghị ama na obi kpọrọ nkụ (Ndị Efesọs 2:1; 4:18). Ihe Pọl kwuru ná Ndị Rom isi asaa agaraghị abụ ụdị onye ahụ.

Ihe ha na-akọwa bụ ihe omimi dị ịtụnanya nke Ndị Kraịst na-enwe. Onye Kraịst nke kweere na Jisọs dị ndụ n'ime mmụọ, ma ọ ka na-ebi n'anụ ahụ nke nwụrụ nnọọ anwụ nye ndụ Chineke.

Ka a sịkwa ihe mere Pọl ji tie mkpu, sị: "Madu nke hujuru anya ka mu onwem bu! ònye gādọputam n'aru nke ọnwu a?" (Ndị Rom 7:24)

Ka a sịkwa ihe mere o ji dị mkpa ka a na-akụziri mmadụ ihe banyere Chineke ozugbo a mụchara ya ọzọ!

*Ọnụ Ego Agụmakwụkwọ Na-Efu*

Mmadụ ọ bụla nwere ndụ nke anụ ahụ dị ka onyinye ndị mụrụ ya nyere ya, dị nnọọ ka Onye Kraịst ọ bụla nwere ndụ ebighị ebi dị ka onyinye sitere n'aka Chineke, bụ́ Nna anyị nke eluigwe. Ma izi ihe—n'akụkụ abụọ ahụ—chọrọ ịrụsi ọrụ ike.

Ọ bụ nanị mgbe anyị na-eme ihe ndị metụtara uto na ọganihu ime mmụọ ka ọrụ ọma na-ekere òkè kwesịrị ekwesị. Baịbụl mere ka o doo anya na ha enweghị ihe jikọrọ ha na ịmụ mmadụ ọzọ na ịbụ onye a gụrụ ná ndị ezi omume.

Pọl onyeozi, karịsịa, ji ọtụtụ okwu mee ihe iji mee ka isi ihe a doo anya. Ya mere, na Ndị Rom 4, o dere, sị: "Ma onye nālu ọlu, agughi ugwọ-ọlu-ya nye ya dika amara, kama dika ugwọ." (Ndị Rom 4:4). Pọl na-ekwu na ọ bụrụ na ọ bụ n'ihi ọrụ ka e ji nye ya, ụgwọ ọrụ ahụ abụghị n'ihi obiọma na-erughịrị mmadụ ma ọlị. A na-enweta ụgwọ ọrụ ahụ!

Echiche a abụghịkwa ihe Pọl mere n'amaghị ama. Ọ sịkwara n'ebe ọzọ: "Ma ọ buru na ọ di n'amara, o siteghi kwa ọzọ n'ọlu: ebe ahuru na amara abughi amara ọzọ, ma asi na ọ dighi otú a." (Ndị Rom 11:6).

Nke a, kwa, doro nnọọ anya. Ọ dịghị ihe pụrụ ịbụ site n'amara na site n'ọrụ n'otu oge ahụ. Ha na-egbochi ibe ha. Ịgwakọta ha bụ ịgbanwe àgwà ha kpam kpam. Ma ọ́ bụghị otú ahụ, amara agaghị abụkwa amara, ọrụ agaghịkwa abụ ọrụ. Ihe odide Pọl na-ekwu nke a n'ụzọ doro anya.[4]

N'ụzọ dị iche, nkà mmụta okpukpe nzọpụta dabeere na ọrụ na-agbagha eziokwu a mgbe ụfọdụ site n'ikwu na Pọl na-atụnyere amara na ọrụ ezi omume onwe onye ma ọ bụ ọrụ ndị e mere iji nweta uru n'ihu Chineke.[5] Ma ọdịiche a enweghị ntọala n'echiche Pọl. Onyeozi ahụ na-ekwu okwu ebe a, na n'ebe ndị ọzọ, nanị banyere ọrụ.[6] Ọ bụrụ na Chineke na-anabata anyị site n'amara ọ pụghị inwe ihe ọ bụla jikọrọ ya na ọrụ ọ bụla.

Ya mere, mgbe ndị nkụzi nke nzọpụta dabeere na ọrụ na-ekwu na "nzọpụta bụ onyinye, ma ọ na-efu ihe niile,"[7] ha anaghị asụ asụsụ nke Baịbụl.

Asụsụ nke Baịbụl na-ekwu doro anya nye ndị nile dị njikere ịnụ ya: "Ma onye *nālughi ọlu*, kama ọ kwere n'Onye ahu Nke *nāgu* onye nāsọpughi Chineke n'onye ezi omume, anāgu okwukwe-ya nye ya dika ezi omume" (Ndị Rom 4:5, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche)

Ụkpụrụ a, nke a na-eji maka ịbụ onye ezi omume bụ kpọmkwem otu ihe ahụ mgbe ọ na-eji ya eme ihe maka ịmụgharị ọhụrụ.

*O siteghi n'ọlu di iche iche aluru n'ezi omume*, nke ayi onwe-ayi luru, zọputa ayi, kama dika ebere-Ya si di, site *n'ọsisa nke imu-ọzọ* na nke ime ọhu nke Mọ Nsọ nēme, Onye Ọ wusara ayi nime àkù-Ya nile, site n'aka Jisus Kraist Onye-nzọputa-ayi; ka, ebe ewere amara-Ya *gua ayi* na ndi ezi omume, ka ayi we ghọ ndi-nketa dika olile-anya nke *ndu ebighi-ebi* si di. (Taịtọs 3:5-7, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche)

Ònyekwa pụrụ ichefu okwu ahụ dị ebube dị n'isi nke abụọ nke akwụkwọ ozi Pọl degaara ndị Efesọs? N'amaokwu ahụ a ma ama ọ na-ekwu: "N'ihi na ọ bu amara ka ejiworo zọputa unu, site n'okwukwe; nka esiteghi kwa n'onwe-unu: ọ bu onyinye Chineke: o siteghi n'ọlu, ka onye ọ bula we ghara inya isi." (Ndị Efesọs 2:8-9). Pọl na-emesi anyị obi ike na ọrụ adịghị arụ ọrụ ọ bụla ná nzọpụta. Ahụmahụ nzọpụta bụ site n'amara site n'okwukwe nanị. Ọ bụ onyinye Chineke nyere anyị n'efu.

N'agbanyeghị nke ahụ, ọrụ dị iche iche na-ekere òkè n'ahụmahụ Onye Kraịst na-enwe mgbe *a mụsịrị* ya n'ụzọ ime mmụọ ma mee ka ọ bụrụ onye ezi omume. N'amaokwu ahụ e kwuru

n'elu, Pọl gara n'ihu na-ekwu ya: "N'ihi na ayi bu ihe O mere, ndi ekère èkè nime Kraist Jisus ilu ezi ọ1u, nke Chineke buru uzọ dozie ka ayi we jegharia nime ha" (Ndị Efesọs 2:10).

Mgbe ụfọdụ, a na-aghọtahie akụkụ Akwụkwọ Nsọ a. Mgbe ụfọdụ a na-agụ ya dị ka a ga-asị na ọ pụtara na onye ahụ kwere ekwe ga-eje ije n'ezie n'ezi ọrụ ndị Chineke kwadebewooro ya. *Ma, ọ bụghị ihe Pọl kwuru*.

Kama nke ahụ, Pọl na-ekwupụta *nzube* Chineke maka anyị. Chineke *chọrọ* ka anyị na-arụ ezi ọrụ. Ma ànyị na-eme otú ahụ ma ọ bụ na anyị adịghị adabere n'ọtụtụ ihe ndị dabeere na Baịbụl bú ndị metụtara uto ime mmụọ.

A na-achọta akụkụ Akwụkwọ Nsọ yiri nke ahụ na Jọn 3:17: "N'ihi na Chineke eziteghi Ọkpara-Ya n'uwa ka O kpe uwa ikpé; kama ka ewe site n'aka-Ya zọputa uwa." Ọzọkwa, akụkụ Akwụkwọ Nsọ a adịghị ekwu na *a ga*-azọpụta ụwa. Kama nke ahụ, ọ na-ekwu na Chineke *chọrọ* ka ọ dịrị otú ahụ nakwa na O zitere Ọkpara Ya ime ka nke a kwe omume.

E kwuwerị, Chineke "nāchọ ka azọputa madu nile, ka ha biaru kwa nmazu nke ezi-okwu." (1 Tim. 2:4). Ma, ihe Chineke *chọrọ* ka o mee na ihe o ji amamihe ya *kpebie* na ọ ga-eme abụghị otu ihe mgbe niile.

Ka e kwuo ya n'ụzọ doro anya. Nkebi ahịrịokwu Grik dị na Ndị Efesọs 2:10 ("na ayị we jegharịa nime ha") bụ otu ụdị nkebi ahịrịokwu ahụ dị na Jọn 3:17 ("ka ewe site n'aka-Ya zọpụta ụwa). N'akụkụ Akwụkwọ Nsọ nke ọ bụla, anyị ahụghị ihe ọ bụla na-egosi na nzube ahụ e kwuru ga-emezu.

N'ihi ya, iziga Ọkpara Chineke mere ndokwa zuru ezu maka ụwa ịgbanahụ ikpe Chineke ma bụrụ ndị a ga-azọpụta. Ma, ọ pụtaghị na ọ ga-eme otú ahụ. N'otu aka ahụ, ọrụ ebube nke nzọpụta Chineke n'ime ndụ anyị, nke a rụzuru site n'amara site n'okwukwe na-enweghị ọrụ, na-eme ndokwa zuru oke maka ndụ nke ọrụ ọma nke Chineke zubere anyị maka ya. Ma ọ dịghị ekwe nkwa nke a.

N'agbanyeghị nke ahụ, site n'ọrụ ebube a nke amara, anyị aghọwo ọrụ aka Chineke. Ebe ọ bụkwa Onye Ọkà Ọrụ, ọ dịghị ihe abụọ O kere eke nke ha na-aha nhata. Ya mere, onye ọ bụla n'ime anyị bụ ihe okike Ya pụrụ iche n'ime Kraịst Jizọs. A kwadebekwara maka onye ọ bụla n'ime anyị ọrụ pụrụ iche na nke a kapịrị ọnụ nke e mere anyị n'ụzọ zuru okè ịrụzu.

Ma, anyị kwesịrị ịgbasi mbọ ike ka anyị nwee ike ime ha.

Nke a bụ kpọmkwem ihe Pita onyeozi na-akụziri anyị n'akwụkwọ ozi ya nke abụọ. Nke mbụ, ọ na-ekwupụta ndokwa bara ụba nke Chineke meworo maka anyị n'ahụmahụ nzọpụta. Chineke, ka o kwupụtara, "Nyeworo n'aka-ayi ihe nile di ndu na nsọpuru-Chineke n'efu, site na nmazu nke Onye ahu Onye ji ebube na idi-nma nke aka Ya kpọ ayi" (2 Pita 1:3). Ma nke a abụghị òkù a na-akpọ ka mmadụ ghara ime ihe ọ bụla. Kama nke ahụ, ọ na-agba anyị ume ịdị uchu:

Ma n'ihi otù ihe a n'akuku-unu tukwasinu inu-ọku-*n'obi nile*, nyezu-kwa-nu idi-nma n'okwukwe-unu; nyezu kwa ihe-ọmuma n'idi-nma-unu; nyezu kwa ijisi-onwe-unu-ike n'ihe-ọmuma-unu; nyezu kwa ntachi-obi n'ijisi-onwe-unu-ike; nyezu kwa nsọpuru-Chineke nime ntachi-obi-unu; nyezu kwa ihuunanya umu-nna nime nsọpuru-Chineke-unu; nyezu kwa ihu-n'anya nime ihu-n'anya-umu-nna-unu. *N'ihi na asi na unu nwere ihe ndia*, asi kwa na unu nwere ha ri nne, ha nēdo unu ndi *nābughi ndi nādighi-alu ọlu ma-ọbu ndi nādighi-ami nkpuru* rue imazu Onye-nwe-ayi Jizọs Kraist. (2 Pita 1:5-8, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche)

Ya mere, ahụmahụ Ndị Kraịst na-amalite site n'okwukwe. Site n'okwukwe, anyị na-eji ndụ Chineke nyere anyị, bú nke nwere ihe ndị pụrụ iche na-enweghị atụ, eme ihe. Nke ahụ bụ n'efu.

Ma site n'ebe ahụ gaa n'ihu, a ghaghị ịdị uchu. A ghaghị inwe ọchịchọ ịrụ ọrụ, na ịrụsi ọrụ ike. N'ezie, Chineke ga-eji mmesapụ aka nye anyị enyemaka ya ma ọ bụrụ na anyị emee otú ahụ. Ma anyị aghaghị *ịchọ* enyemaka ahụ, anyị aghaghị *ịgbalịsi ike inweta* ya, anyị aghaghị *ịdị njikere* iji ntachi obi nile na-eme ihe n'usoro nke uto Ndị Kraịst. Ọ dịghị ụzọ ọzọ a pụrụ isi na-amị mkp,mụrụ.

N'ezie, anyị pụrụ inweta ọzụzụ ime mmụọ. Ma iji nweta ya, anyị aghaghị ịdị njikere ịkwụ ụgwọ ya.

*Mmechi*

N'otu ihe odide Pọl dere banyere izi ihe ime mmụọ, onyeozi ahụ dere ihe na-esonụ:

> N'ihi na egosiri amara nke Chineke, nēwetara madu nile nzọpụta, *nādọ ayi aka na nti* ka ayi we ju asọpurughi-Chineke na agu ihe ọjọ di n'uwa, we di ndu uche zuru okè na nke ezi omume na nke isọpuru-Chineke n'oge di ubu a (Taịtọs 2:11-12, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche)

Okwu mbụ Pọl ji mee ihe n'ebe a maka "izi ihe" bụ okwu e ji mee ihe karịsịa n'asụsụ Grik maka agụmakwụkwọ na ọzụzụ nke nwatakịrị. Ozi nke amara nzọpụta Chineke bụ maka "mmadụ nile," ma agụmakwụkwọ ọ na-eweta bụ maka "anyị," ụmụ Chineke a mụrụ ọzọ.

Ma Pọl echeghị na usoro izi ihe ahụ ga-adị irè n'ụzọ na-apụghị izere ezere nye ndị kwere ekwe nile. Dị ka o gosipụtara n'ebe nile n'akwụkwọ ozi ya, ọ bụ onye na-eme ihe n'eziokwu banyere ihe ize ndụ ime mmụọ ndị chere ndị a tọghatara n'okwukwe ya ihu, nakwa banyere ohere nke ọdịda.

N'ihi ya, Pọl eleghị ọrụ ọma anya dị ka ihe na-enweghị ihe o mere ná ndụ onye ahụ kwere ekwe. Kama nke ahụ, ọ dị ya mkpa ịgwa Taịtọs, sị:

> Okwu a kwesiri ntukwasi-obi, anamezube kwa ka i kwusie okwu bayere ihe ndia ike, ka ndi kweworo okwu Chineke we tukwasi uche n'ibu ndi-isi n'ọlu ọma. Ihe ndia di nma buru kwa ihe bara madu urù (Taịtọs 3:8).

"Ekwela ka nche gị daa, Taịtọs," ka Pọl na-ekwu. "Ezi ọrụ bụ ihe ị na-aghaghị ichetara ndị kwere ekwe mgbe nile. Ha aghaghị ịkpachapụ nnọọ anya banyere ilekọta ọrụ ndị dị otú ahụ, ọ bụkwa akụkụ nke ọrụ gị ịhụ na ha dị otú ahụ."

Ya mere, nke a bụ ezi ihe atụ Baịbụl nke ahụmahụ ndị Kraịst. Mgbe a mụrụ anyị n'ụzọ ime mmụọ, e nyere anyị ihe nile dị anyị mkpa iji bie ndụ dị irè dị ka Ndị Kraịst. Ma anyị aghaghị ịdị uchu n'ịzụlite ikike ndị a, ọ bụrụkwa na anyị na-arụ ezi ọrụ, anyị aghaghị ịkpachara anya nke ukwuu iji nọgide na-arụ ha.

Ma ọ bụ, n'ikwu ya n'ụzọ ọzọ, ọ dị anyị mkpa itinye onwe anyị kpam kpam n'ihe mgbaru ọsọ nke agụmakwụkwọ ime mmụọ anyị na-eduga anyị iru. Ọ dịghị ihe mgbaru ọsọ ọzọ a pụrụ ikwe ka o gbochie ya. N'ezie, anyị aghaghị ịrara onwe anyị nye Onyenwe anyị ruo n'ókè nke na ịhụnanya anyị nwere n'ebe Ọ nọ ga-akarị ịhụnanya nile ọzọ. N'iji ya tụnyere nrara anyị raara onwe anyị nye Ya, ịhụnanya ọ bụla nke abụọ aghaghị ịdị ka ịkpọasị.

"Nke ahụ bụ ihe ọ ga-efu gị ịbụ nwa akwụkwọ m," Jizọs na-agwa igwe mmadụ ahụ (Luk 14:26). "

"Usoro mmụta m siri ike nke ukwuu nke na ọ gaghị ekwe omume ịbụ nwa akwụkwọ m ma ọ bụrụ na ịgaghị 'akpọ' nna gị na nne gị, nwunye gị na ụmụ gị, ụmụnne gị, na, ee, ọbụna ndụ gị n'onwe ya asị."

"Tupu i debanye aha, chee echiche banyere ya!"

# Isi Nke 7

# Ịkwụsị Akwụkwọ

E nwere ezi ihe mere Onyenwe anyị Jizọs ji kwusie okwu ike na mmadụ kwesịrị ichesi echiche ike tupu ya ekpebie ịghọ nwa akwụkwọ Ya. Ọ bụghị na usoro ihe ọmụmụ Ya siri ike ịmalite. Nsogbu ya bụ na o siri ike ịrụcha ya.

Ọ bụ ya mere Jizọs ji kwuo ihe ahụ o kwuru ozugbo o kwuchara banyere "ịkpọ ezinụlọ na ndụ asị." N'ihi na, na-agbaso ihe ndị siri ike Ọ chọrọ na Luk 14:26, Ọ na-ekwu nke a:

> Onye ọ bula nke nēbughi obe nke aka ya, sokwam n'azu, ọ pughi ibu onye nēso uzọm. N'ihi na ònye nime unu, nke nāchọ íwu ulo-elu, nēbughi uzọ nọdu ala gu ego ọ gēwe, ma o nwere ego ọ gēji lusia ya… (Luk 14:27-28).

Ihe Ọkpara Chineke na-akọwa n'ebe a banyere ịbụ onye na-eso ụzọ abụghị ihe na-adọrọ adọrọ. Ọ bụrụ na onye ọ bụla chọrọ iso Ya dị ka Onye Ozizi ya, e nwere ibu ọ ga-ebu n'okporo ụzọ. A kọwara ibu ahụ dị ka obe.

Ihe ịrụ ụka adịghị ya na ọ bụ nanị mgbe e mesịrị, mgbe ihe omume ndị ahụ e mere na Kalvari gasịrị, ka chọọchị ghọtara mmetụta okwu a nwere n'ụzọ zuru ezu. Ma ọbụna nye ìgwè mmadụ ndị nụrụ ya na nke mbụ ya, ọ ghaghị ịbụ nke dị oké mkpa.

A na-akpọgide ndị omekome n'osisi ndị dị otú ahụ. Mkpọgbu yiri ka ihe ọtụtụ ndị na-ege Jizọs ntị hà jirila anya ha hụ. Ihe okwu ahụ bú "obe" pụtara na-eyi egwu. Gịnị ka nke ahụ pụrụ ịpụta nye onye na-eso ụzọ Onye Ozizi a?

N'agbanyeghị ihe ọ pụtara, onye na-ege ntị pụrụ, ma ọ dịghị ihe ọzọ, ịghọta otú okwu ọzọ Onyenwe anyị kwuru si kwesị ekwesị. Mmadụ ịghọ onye na-eso ụzọ Ya na-efu ihe, dị nnọọ ka iwu ụlọ elu na-efu ihe. Ọ dịghị onye na-ewu ụlọ nke nwere ezi uche ga-amalite iwu ụlọ elu (ọ bụ ezie na ụfọdụ ndị nzuzu emewo otú ahụ) n'ebughị ụzọ gbakọọ ma ọ̀ ga-enwe ego ọ ga-eji wuchaa ya. Ọ bụrụ na mmadụ emezughị nke a ná mmalite, o nwere ike ịkpatara ya ezigbo nsogbu ma e mechaa.

Ya mere Jizọs gara n'iru ikwu, "…Ka ndi nile ndi nāhu ya we ghara imalite ime ya ihe-ọchì ma eleghi anya, mḅe ọ tọsiri ntọ-ala-ya, ma o nweghi ike iwuzu ya, si, Nwoke a malitere iwu ulo, ma o nweghi ike iwusi ya" (Luk 14:29, 30).

"Ọ ga-ekwe omume," Jizọs na-ekwu, "na ị pụrụ ịmalite dị ka 'nwa akwụkwọ' m, ma na ị gaghị enwe ike ịnọgide n'ụzọ ahụ. O nwere ike ị gaghị enwe ike ịgụcha ya."

N'ụzọ dị mwute, ọtụtụ ndị nkụzi bú Ndị Kraịst adịghị ekwu okwu n'ezoghị ọnụ dị ka Jizọs n'onwe ya kwuru banyere ịbụ onye na-eso ụzọ. Ha adịghị ekwu okwu n'ezoghị ọnụ n'ịdọ ndị kwere ekwe aka ná ntị na usoro agụmakwụkwọ pụrụ isi ike, nakwa na "ịpụ" na ya bụ ihe ize ndụ nke a na-aghaghị iche ihu n'ezoghị ọnụ.

Eziokwu dị mfe bụ na Akwụkwọ Nsọ Agba Ọhụrụ adịghị ewere ya dị ka ihe na-enweghi ihe ọ bụ na ndị kwere ekwe ga-ahụ na ha bụ ndị na-eso ụzọ ruo ọgwụgwụ. Ọ dịghịkwa eme ka ụdị ntachi obi a bụrụ ọnọdụ ma ọ bụ ihe àmà nke nzọpụta ikpeazụ site na ọkụ ala mmụọ.

Ihe ọ na-eme, ugboro ugboro, bụ ịdọ ndị kwere ekwe aka ná ntị banyere ihe ize ndụ nke ịghara ịtachi obi. N'ikwu ya n'ụzọ e si ekwu ya n'oge a, Baịbụl na-adọ Ndị Kraịst aka ná ntị ka ha ghara 'ịpụ' n'usoro agụmakwụkwọ.

*Ihe Ịma Aka nke Ịga n'Ihu*

Ọ dịghị nne na nna nwere uche n'ụwa nke ga-eche na nwa ha ga-agụsị akwụkwọ nanị n'ihi na ọ bụ nwa ha. Ọbụna n'ezinụlọ ndị gụrụ oké akwụkwọ, bụ́ ebe o yiri nnọọ ka ụmụaka nile hà ga-agụsị akwụkwọ, ọ pụrụ ime n'ezie na otu n'ime ha ma ọ bụ karịa agaghị agụcha akwụkwọ.

E nwere ọtụtụ ihe nwere ike ịkpata nke a. Nsogbu nke ịmụta ihe pụrụ igbochi nwatakịrị ịgụcha akwụkwọ. Ihe ọzọ pụrụ ịkpata ya bụ ịṅụ ọgwụ ọjọọ (nke jupụtara ebe nile ugbu a nke na ọbụna ụmụntakịrị nọ n'ihe ize ndụ). Ma ọ bụ ọ nwere ike bụrụ nsogbu uche, ọrịa anụ ahụ́, ma ọ bụ enweghị ike ime mgbanwe iji kwekọọ n'ọnọdụ e nwere n'obodo.

Nne ma ọ bụ nna nwere ezi uche maara ihe ize ndụ ndị a nile, ọ dịghịkwa ewere ha dị ka ihe na-apụtachaghị ìhè. Mgbe ọ bụla ọ dị mkpa, nne ma ọ bụ nna ahụ ga-agba nwatakịrị ahụ ume izere ọnyà na ịnọgide na-enwe ahụmahụ mmụta.

Ma Chineke Nna na-eme kpọmkwem otu ihe ahụ. Olee ebe anyị si nweta echiche ahụ bụ́ na Ọ dịghị eme otú ahụ?

N'ezie, n'otu ebe mara mma n'akwụkwọ Ndị Hibru, onye dere ya bụ́ onye a na-akpọghị aha na-agba anyị ume n'ụzọ siri ike ịnọgide na-eje ije dị ka Ndị Kraịst. Ma tupu ya emee nke a, ọ chịkọtara ihe ùgwù ime mmụọ nke ịbịakwute Chineke, bụ́ nke ndị Kraịst na-agụ akwụkwọ ya nwere. Ọ na-ede, sị:

> Ya mere, umu-nnam, ebe ayi nwere nkwuwa-okwu ibà n'ebe nsọ ahu site n'ọbara Jisus, bú uzọ O mere ọhu nye ayi, nke di ọhu di kwa ndu, site n'ákwà-nḅochi, nke ahu bu, anu-aru-Ya; ebe ayi nwe-kwa-ra Onye-nchu-àjà uku edoro onye-isi èzí-na-ulo Chineke; ka ayi were obi ezi-okwu biarue nso nime nkwezu nke okwukwe, buru kwa ndi efesaworo ọbara n'obi-ayi pua n'ajọ akọ-na-uche, ndi asachawo-kwa-ra aru-ayi na miri di ọcha (Ndị Hibru 10:19-22).

Ọtụtụ ndị ji ihe ùgwù a magburu onwe ya nke Ndị Kraịst kpọrọ ihe n'ụzọ kwesịrị ekwesị. Ma, o doro anya na ndị odeakwụkwọ ahụ na-agwa okwu bụ Ndị Kraịst. Onye edemede ahụ gosikwara Ndị Kraịst a ozugbo na ihe banyere ha na-emetụ ya n'obi.

> Ka ayi *jidesie* nkwuputa nke olile-anya-ayi *ike* ka ọ ghara iruda n'ala; n'ihi na Onye ahu Nke kwere nkwa kwesiri ntukwasi-obi: ka ayi nātugharita kwa uche n'aru ibe-ayi ikpasu ihu-n'anya na ọlu ọma di iche iche; *ka ayi ghara kwa irapu nzukọ nke onwe-ayi*, dika ufọdu nēme, kama ka ayi nādusi ndi ọzọ ọdu ike; ka ayi me kari kwa otú a, n'uzọ ra otú unu nēle ubọchi ahu anya ka ọ nābiaru nso. (Ndị Hibru 10:23-25, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche)

"Lezie anya", ka onye edemede a na-adọ aka ná ntị, "ka ị ghara ịkwụsị iga akwụkwọ. Jidesie olileanya gị dị ka Onye Kraịst ike."

Dị ka o kwesịrị ịdị, chọọchị n'onwe ya bụ ụlọ akwụkwọ ime mmụọ dị oké mkpa bụ́ ebe ndị kwere ekwe oge mbụ dị ka ndị a nọ mụta ọtụtụ ihe banyere eziokwu Chineke. Ịkwụsị iso ndị kwere ekwe ndị ọzọ na-ezukọta maka ntụziaka na ofufe, na ọbụna ịhapụ nkwupụta nke onye Kraịst, bụ ihe ọ bụla ma ọ bụghị ịhapụ ọnọdụ onye ahụ dị ka nwa akwụkwọ—onye na-eso ụzọ—Jizọs Kraịst.

N'ezie, e nwere ndị na-agbalị ime ka ịdọ aka ná ntị a metụta nanị ndị na-azọrọ na ha bụ Ndị Kraịst bụ́ ndị na-abụghị Ndị Kraịst n'ezie ma ọlị. Ọ bụrụ na nke ahụ bụ ihe onye dere Ndị Hibru chere n'ezie, ọ rụọla ọrụ magburu onwe ya n'izochi ya!

Ka onye na-agụ akwụkwọ anyị lee anya ọzọ n'amaokwu ndị e hotara n'akwụkwọ ozi a dị mkpa (Ndị Hib 10:19-25). E wezụga ajọ ebumnobi a na-enwe n'ihe banyere nkà mmụta okpukpe, ònye ga-eche na ọ bụghị ezi Ndị Kraịst ka a na-adọ aka ná ntị n'ebe a?

Otu ihe ahụ bụ eziokwu banyere okwu onye edemede ahụ mesịrị kwuo n'isiakwụkwọ ahụ:

> Ma nēchetanu ubọchi mbu ahu, nke ọ bu nime ha, mḅe enyesiri unu ìhè, ka unu tachiri obi n'oké iḅa-nḅa nke ahuhu
> di iche iche… N'ihi na unu ji obi so ndi nọ n'aḅu hukọ ahuhu, unu were kwa ọṅù nara npunara ahu nke-ọma, bú nke apunara unu ihe nile unu nwere, ebe unu mara na unu nwere onwe-unu dika ihe unu nwere, bú ihe ka nma nke nādigide kwa (Ndị Hibru 10:32, 34).

Ọzọkwa, a na-ele ndị na-agụ ya anya dị ka Ndị Kraịst—na dị ka Ndị Kraịst maara na ha nwere ihe onwunwe n'eluigwe.

Ma onye edemede ahụ na-agbakwụnye ozugbo: "Ya mere unu etufula nkwuwa-okwu-unu, bú ihe nke nwere oké nnyeghachi nke ugwọ-ọlu." (Ndị Hibru 10:35). "Chere obere oge! Jide n'aka!" ka onye dere ya kwuru. "Etufula obi ike nke na-eduga gị na nnukwu ụgwọ ọrụ!" [1]

N'ihi ya, ọ bụ ihe na-ezighị ezi n'ụzọ nkà mmụta okpukpe ikwu na Onye Kraịst nke banyere n'ụzọ nke ịbụ onye na-eso ụzọ apụghị ịhapụ ya ma ọlị. N'ebe ime mmụọ, echiche a bụ ihe nzuzu dị ka nna nke ụwa na-ekwupụta, "Nwa *m* nwoke agaghị ahapụ ụlọ akwụkwọ!"

N'ihi ya, ọ bụ ihe dị ịrịba ama na Pọl ji ndụ Ndị Kraịst tụnyere ọsọ nke onye ọ bụla na-agba ya na-adịghị emeri n'onwe ya, ọbụna ya onwe ya adịghị emeri. N'ụzọ doro anya, o dere, sị:

> Ùnu amataghi na ndi nāḅa ọsọ n'ebe ọsọ, ha nile nāḅa ọsọ, ma ọ bu otù onye nāḅata ihe ọsọ? Nāḅanu otú a, ka unu we ḅata… Ya mere mu onwem nāḅa ọsọ otú a, dika onye nādighi-aḅa nēleghi anya ihe; otú a ka m'nēsu ọkpọ, dika onye nādighi-apia ifufe: ma anametiputa arum ọnyá, me kwa ya ka ọ buru orùm: *ka mu onwem ghara ighọ onye ajuru aju n'uzọ ọ bula, mḅe m'kwusasiri okwu Chineke nye ndi ọzọ* (1 Ndị Kọrịnt 9:24, 26-27, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche).

"Ọbụna anaghị m ewere mmeri n'ọsọ a dị ka ihe na-enweghi ihe ọ bụ," ka Pọl kwupụtara. "Kama nke ahụ, ana m eme ihe niile m nwere ike ime iji zere ịbụ onye a jụrụ ajụ na njedebe."

Ọzọkwa, a kpọtụghị itufu ndụ ebighị ebi aha n'ebe a. Ntufu dị otú ahụ agaghị ekwe omume, dị ka Onyenwe anyị n'onwe ya mere ka o doo anya.[2] Ma onyeozi ahụ pụrụ n'ezie ịhụ n'echiche na ọbụna ya onwe ya—onye na-ekwusara ndị ọzọ ozi ọma—pụrụ ịla n'iyi ihe nrite Chineke na-enye ndị na-agba ọsọ nke ọma.

Ọ bụ nanị mgbe Pọl guzo n'ọnụ ọnụ ọnwụ ka o nwere ike iji mmetụta dị ukwuu nke inwe mmeri tụlee ndụ ya nile dị ka Onye Kraịst.

Okwu ya a ma ama:

> Aḅasiwom nḅa ọma ahu, aḅasiwom ọsọ ahu, edebesiwom okwukwe ahu: nke fọduru bu na edebeworom okpu-eze nke ezi omume ahu, nke Onye-nwe-ayi, bú Onye ezi omume n'ikpe ikpé, gēnyeghachim n'ubọchi ahu: ma ọ bughi nání mu onwem, kama Ọ gēnyeghachi kwa ndi nile huworo ngosi-Ya n'anya (2 Timọti 4:7-8).

A pụghị ikwu na ndụ Onye Kraịst ọ bụla na-aga nke ọma ọ gwụla ma o nwere ihe ịga nke ọma ná *ngwụsị ya*. Ọ bụghị naanị n'ihi na anyị agbaala ọsọ a ọtụtụ afọ ka anyị ji ruo ebe anyị na-aga. Ma ọ bụ, n'ikwu ya n'ụzọ ọzọ, ọrụ nke iwu ụlọ elu nke ịbụ onye na-eso ụzọ Kraịst na-achọ ịnọgidesi ike ruo mgbe a rụchara ụlọ elu ahụ (Luk 14:28). Ịkwụsị ya pụtara na anyị ga-eme ka ndị nọ anyị gburugburu na-akwa anyị emo, meekwa ka aha Onyenwe anyị bụrụ ihe ihere.

Ma ọ bụrụ na onye ọ bụla echee na ọ dịghị ezi onye Kraịst pụrụ ịkwụsị ya, ma ọ bụ na ọ gaghị akwụsị ya, ọ bụghị Baịbụl ka ọ na-elebara anya. Ọ dị ha mkpa ịgụghachi Akwụkwọ Nsọ Agba Ọhụrụ ha. Na nke ugbu a, na nke ugbu a, na nlezianya.

*Ịdọ Ndị Furu Efu Aka ná Ntị*

Otu ihe doro anya site n'ihe e kwuworo ruo ugbu a. Ọ bụrụ na usoro agụmakwụkwọ a na-akpọ ibụ ndị na-eso ụzọ na-achọ ihe dị ukwuu otú ahụ, ọ dịghị onye kwesịrị ịnwa idebanye aha ya n'akwụkwọ ma ọ bụrụ na o nwebeghị ikike ime mmụọ ndị a na-enye n'efu n'oge a mụrụ ya ọzọ.

Ma ụfọdụ na-anwa ime nke a. N'ihi ya, mgbe Onyenwe anyị na-agwa ìgwè mmadụ ahụ banyere ihe ndị a chọrọ n'aka ya iji bụrụ onye na-eso ụzọ, ọ ghaghị ịbụ na o bu nke a n'uche.

N'ezie, dị ka e kwuworo, Jizọs chọrọ ka *onye ọ bụla* gaje ịbụ onye na-eso ụzọ Ya jiri nlezianya tụlee ihe ndị Ọ chọrọ n'aka ya. Nke a abụghị nanị ihe pụtara ìhè site n'ihe O kwuru banyere iwu ụlọ elu, kamakwa site n'okwu Ya ndị na-eso. Dị nnọọ ka Onyenwe anyị na-adụ onye na-achọ ịbụ nwa akwụkwọ ya ọdụ ka ọ "nọdụ ala", dị ka onye na-ewu ụlọ elu, "ma gbakọọ ihe ọ ga-efu", otú ahụ ka Ọ na-ekwukwa:

> "Ma-ọbu òle eze, mḅe ọ nāga ibu agha megide eze-ibe-ya, nāgaghi-ebu uzọ nọdu ala ḅa ìzù ma ọ puru ichi orú nnù ndi-agha na nnù ise zute onye chiri ọgu nnù ndi-agha abua na nnù iri bia imegide ya? Ma ọ buru na ọ pughi, mḅe onye ahu nọ n'ebe di anya uḅu a, o ziga ndi-ozi, riọ ihe gēweta udo." (Luk 14:31-32)

"Ịghọ nwa akwụkwọ m", ka Jizọs na-ekwu, "dị ka ịga agha. Ọzọkwa, ọ dị ka ịga agha megide ndị agha karịrị gị n'ọnụ ọgụgụ. Ọ bụ ihe nzuzu iji ọsọ banye n'agha n'echebaraghị ma a ga-emeri n'agha ahụ."

N'ezie, ọ dị ọbụna Ndị Kraịst a mụrụ ọzọ mkpa ịnụ ụdị nnyocha a na-akpali iche echiche. Ịbụ onye na-eso ụzọ Jisọs Kraịst abụghị òkù a kpọrọ ịga oriri na nkwari n'ụlọ akwụkwọ Sunde. Ọ na-akpọ ha òkù ịlụ agha ime mmụọ.

N'agbanyeghị nke ahụ, Onye Kraịst nwere ihe ndị ga-enyere ya aka ịlụ ọgụ a n'ihi na a mụrụ ya ọzọ. N'ihi ya, site n'ịdabere n'ebe Chineke nọ nakwa site n'iji obi dum rara onwe ya nye Kraịst, ọ pụrụ ịtụ anya ụdị mmeri ahụ Pọl onyeozi nwere. Site n'ike nke Chineke ga-eji mmesapụ aka nye, onye kwere ekwe pụrụ n'ezie ịlụ ezi ọgụ ahụ ma gbaruo ọsọ ahụ n'isi.

Ma olee otú ndị a na-azọpụtaghị pụrụ isi mee nke ahụ? N'ezie, ha apụghị. Ha enweghị ohere ọ bụla nke imecha nke ọma. Ọ dị ha mkpa ịnụ ịdọ aka ná ntị nke Onyenwe anyị ngwa ngwa.

Ma, nke bụ́ eziokwu bụ na n'agbanyeghị okwu ndị siri ike dị otú ahụ, ndị a na-azọpụtaghị n'oge Jizọs ka nọ n'ụwa sonyeere ya. N'ikwu ya n'ụzọ dị mfe, e nwere ndị a na-amụbeghị ọzọ bụ́ ndị debara aha ha dị ka ụmụ akwụkwọ Ya.

Judas bụ ihe atụ bụ́ isi nke nke a, ma e nwere ndị ọzọ. Onyenwe anyị n'onwe ya mere ka nke a doo anyị anya n'otu akụkụ dị mkpa nke Oziọma Jọn.

N'otu oge, mgbe Onye Nzọpụta kwusịrị okwu Ya banyere achịcha nke ndụ, a kpasuru ndị na-eso ụzọ Ya iwe. Ha na-enwe nkụda mmụọ karịsịa site n'ihe atụ nke Onyenwe anyị banyere okwukwe na-azọpụta dị ka iwere Onwe Ya n'ụdị mmadụ Ya. Ọ kọwara nke a dịka iri anụ ya na ịn̄ụ ọbara ya (Jọn 6:53-58).

Ọgba aghara na-esochi ngwa ngwa n'etiti ndị na-eso ụzọ Ya: "Ya mere ọtutu nime ndi nēso uzọ-Ya, mḅe ha nuru okwu ahu, ha siri, Okwu a di ike; ònye puru inu ya?" (Jọn 6:60)

Na nzaghachi, Jisos dọrọ ndị na-eso ụzọ a aka na ntị na mgbagwoju anya ha banyere okwu Ya na-eme ka ha ghara ịdị njikere maka eziokwu siri ike nke dị n'ihu (Jọn 6:61-62). Ọ bụrụ na eziokwu metụtara ịghọ mmadụ Ya na-akpasu ha iwe, lee ka eziokwu metụtara nlọghachi Ya n'ebube ga-esi kpasuo ha iwe karị? Ọzọkwa, Ọ na-ekwu, ha ewerewo okwu Ya n'asụsụ sara mbara, kama n'echiche nke mmụọ nke e bu n'obi ya (Jọn 6:63). Mgbe ahụ, Ọ na-agbakwụnye, sị: "Ma ufọdu ndi nēkweghi di n'etiti unu" (Jọn 6:64a)

Ka a sịkwa ihe mere ụfọdụ n'ime ha ji nwee nsogbu n'ihe Onyenwe anyị kwuru banyere okwukwe na-azọpụta ndụ. Ha enweghị okwukwe dị otú ahụ n'ihi na ha ewerebeghị Ya dị ka Achịcha nke Ndụ.

Ma ka anyị jiri nlezianya rịba otu ihe ama. Jọn onye na-ezisa ozioma dere na "*ọtụtụ* n'ime ndị na-eso ụzọ ya" hụrụ okwu Ya dịka ihe siri ike (Jọn 6:60). Ma Jizọs siri, "*Ụfọdụ* nime unu" ekweghi (Jọn 6:64).

Ọ bụghị nanị ndị na-eso ụzọ ahụ a n'amụbeghị ọzọ ka ihe gbagwojuru anya. Ndị na-eso ụzọ a mụrụ ọzọ pụkwara ịbụ ndị ihe ọmụma a bara ụba, nke ọhụrụ banyere omume nzọpụta nke iwere ihe n'aka ndị ọzọ, gbagwojuru anya. Ma ọ dịkarịa ala, *ụfọdụ* n'ime ndị ahụ na-enwe mgbagwoju anya azọpụtaghị ha. Nke a ejughị Jizọs anya ma ọlị: "N'ihi na Jizọs mara site na mbu ndi ha bu ndi nēkweghi, na onye ọ bu nke gārara Ya nye." (Jọn 6:64b)

Ma ọ bụrụ na Ọ maara, n'ihi gịnị ka O ji kwe ka ha malite n'ụzọ nke ịbụ ndị na-eso ụzọ? Azịza ya ọ̀ bụ na o doghị anya? Ọ *hụrụ* ha *n'anya*—ọbụna Judas. Ọzọkwa, "Nwa nke mmadụ" bịara ịchọ na ịzọpụta ihe nke furu efu (Luk 19:10). Ọ bụrụ na ha chọrọ ịnọdụ n'okpuru nkuzi Ya kwa ụbọchị, gịnị mere na Ya agaghị ekwe ka ha mee otú ahụ? N'ụzọ dị otú ahụ, Ọ pụrụ *ịchọ ha* kwa ụbọchị.

E kwuwerị, Baịbụl na-ekwupụta na "Onye Nzọpụta anyị, bú Chineke... nāchọ ka azọpụta mmadụ nile, ka ha bịaru kwa ezi nmazu nke ezi-okwu" (1 Tim 2:3-4). Ịhụnanya ya enweghị nsọtụ, ọ na-ahụkwa onye ọ bụla n'anya.

Ọtụtụ mgbe (ọ bụ ezie na ọ bụghị mgbe niile) a na-ejikọta usoro nzọpụta dabeere na ọrụ na usoro echiche siri ike nke na-agọnahụ eziokwu nke ịhụnanya Chineke maka mmadụ ọ bụla. Dị ka ụdị nkà mmụta okpukpe a si kwuo, Chineke na-ama ihe ka ọtụtụ ná ndị mmadụ `ikpe ọnwụ ebighị ebi ogologo oge tupu a mụọ ha, ọ na-enyekwa Ọkpara ya n'ezie ka ọ nwụọ nanị n'ihi ndị a họọrọ.[3]

Nye ndị na-eche echiche dị otú ahụ, nkwupụta ahụ bụ́ na "Chineke hụrụ ụwa n'anya nke ukwuu" (Jọn 3:16) aghaghị ịbụ nke a na-ata ahụhụ iji mee ka ọ pụta ihe na-erughị ịhụnanya zuru ụwa ọnụ O nwere n'ebe ihe a kpọrọ mmadụ nọ. Ọ bụghị n'akwụkwọ a ka anyị ga-atụle ihe a jọgburu onwe ya ndị mmadụ mejọrọ. Onye dere akwụkwọ a pụrụ ịtụkwasị obi sọsọ na ọtụtụ ndị na-agụ akwụkwọ ya ga-enwe afọ ojuju n'ịdabere n'okwu ndị dị mfe dị n'Akwụkwọ Nsọ banyere

mmetụta Chineke na ndokwa o mere maka ndị furu efu (Jọn 1:7, 29; 3:16-17; 4:42; 12:32; 2 Ndị Kọrint 5:19; 1 Tim 2:1-6; 4:10; Taịtọs 2:11; 2 Pita 3:9; 1 Jọn 2:2).

Ọ dịghị onye ga-agọnahụ na e nwere ihe omimi banyere ụzọ nzube Chineke ndị bụ́ isi si metụta ibu ọrụ anyị nke ịhọrọ ihe dị mma na ihe ziri ezi. Baịbụl adịghị agbalị idozi esemokwu a maka anyị dị nnọọ ka ọ na-adịghị agbalị ikpughe ihe omimi nke Atọ n'Ime Otu.

Ọ dịghị usoro echiche nke na-eme ka ụmụ mmadụ bụrụ nanị ígwè ọrụ, ma ọ bụ ìgwè ụmụ bebi e ji ụdọ kpụọ, nke na-emezu ihe Baịbụl na-ekwusi ike banyere ibu ọrụ nke mmadụ. Maka ebumnuche anyị ugbu a, anyị na-eche na Chineke bụ n'ezie onye ọchịchị na-emezu ihe niile Ọ na-ekwu. Ma anyị na-echekwa na ọ bụ ọrụ dịịrị onye ọ bụla n'ezie imeghachi omume n'ụzọ dị mma n'ebe Chineke, bụ́ Onye Okike anyị, nọ. Ọtụtụ akụkụ Akwụkwọ Nsọ na-eme ka nke a doo anya (dịka, Ndị Rom 1:18-21; Ọrụ 14:14-17; 17:24-29). Ọ nēgosi kwa Onwe-ya Onye nēnyeghachi ndi nāchọ Ya ugwọ-ọlu. (Ndị Hibru 11:6).

Ya mere, ọ bụ n'ezie omume ịdị mma na ịhụnanya n'ebe Jizọs nọ ikwe ka ndị na-eso ụzọ ya a na-azọpụtaghị azọpụta soro Ya mee njem. O si otú ahụ mee ka ohere ha nwere inwe okwukwe na Ya maka nzọpụta ka mma. Ma n'otu oge ahụ, ihe ùgwù a mere ka ibu ọrụ ha n'ebe Chineke nọ mikwuo emie ma ọ bụrụ na ha emeghị otú ahụ.

Ikekwe ụfọdụ n'ime ndị na-eso ụzọ a a na-azọpụtaghị azọpụta mechara nweta Achịcha nke Ndụ ahụ. N'ezie, Judas emeghị otú ahụ. Ma, anyị amaghị otú ndị nke ọzọ dị. Baịbụl agwaghị anyị.

Ihe Baịbụl kwuru bụ na, n'oge a, ọtụtụ n'ime ndị ụmụ akwụkwọ Ya "kwụsịrị": "Site na nka ọtutu nime ndi nēso uzọ-Ya we laghachi azu, ha esoghi kwa Ya ejeghari ọzọ." (Jọn 6:66).

Ọzọkwa, anyị aghaghị ịkpachara anya. Jizọs kwuru na *ụfọdụ* ekweghị; Jọn kwuru na *ọtụtụ* hapụrụ ya. Ọ dịghị ihe mere a ga-eji chee na a zọpụtaghị *ndị nile* hapụrụ ebe ahụ. N'ezie, e nwere ihe mere a ga-eji chee na ọ bụghị otú ahụ. N'ihi na ihe ọzọ anyị na-agụ bụ nke a: "Ya mere Jisus siri ndi-ozi iri na abua ahu, Ùnu onwe-unu nāchọ kwa ila?" (Jọn 6:67) "Ị̀ na-agba mbọ?" Jizọs jụrụ. "Ka m nụ ka ị na-ekwu ya." N'ụzọ doro anya, okwu Ya na-egosi, "Ọ bụghị ihe na-agaghị ekwe omume ka unu onwe unu kwa pụọ."

Ma ihe anyị ga-arịba ama karịsịa bụ okwu Onyenwe anyị gwara ndị na-eso ụzọ Ya a na-azọpụtaghị. N'ezie, ha nọ n'ọnọdụ dị ize ndụ. N'agbanyeghị okwu ndị siri ike Jizọs kwuru n'ihu ọha banyere ịbụ onye na-eso ụzọ, ha debara aha ha n'akwụkwọ n'agbanyeghị nke ahụ. Ma ọ dịghị ngwụcha obi ụtọ ga-ekwe omume maka ha, ọ gwụla ma ha kwere na Ya maka ndụ ebighi ebi. Ya mere, ọ gwara ha n'ezoghị ọnụ, "Ụfọdụ n'ime unu emebeghị nke ahụ."

N'ebe a, e nweghị mgbagwoju anya dị n'etiti ịbụ onye na-eso ụzọ na nzọpụta, dị ka e nwere taa na nkà mmụta okpukpe nke dabeere na ọrụ. N'otu akụkụ, ọ dịghị mgbe a na-ewere ya dị ka ihe na-enweghi ihe ọ bụ na ịbụ onye na-eso ụzọ Jizọs ga-aga nke ọma ọbụna site n'aka ndị a zọpụtara ruo ọgwụgwụ., N'aka nke ọzọ, a ghọtara na a pụrụ ịkọwa n'ụzọ ziri ezi mmadụ dị ka onye na-eso ụzọ bụ́ onye a na-amụbeghị ọzọ.

N'ihi ya, ịdọ aka ná ntị Onyenwe anyị na-adọ ndị mmadụ n'ihu ọha banyere ihe ọ chọrọ ha n'aka n'ụzọ o si ezi ihe kwesịrị ekwesị n'ụzọ abụọ. Onye ọ bụla nke nwere ọchịchọ idebanye aha ya n'akwụkwọ kwesịrị iji nlezianya tụlee mkpebi a!

*Mmechi*

O doro anya na ebumnuche nke ịbụ onye na-eso ụzọ Onyenwe anyị Jizọs Kraịst bụ maka ndị e mere ka ha dị ọhụrụ site n'okwukwe n'ebe Ọ nọ. Ma ibụ ndị na-eso ụzọ— ọbụna taa—na-

agụnye ime nkwusa na izi ihe n'ihu ọha. O kwesịghị iju anyị anya ma ọ bụrụ na a na-adọta ndị a na-azọpụtaghị mgbe ụfọdụ n'usoro a. N'ezie, ha na-aga chọọchị.

Otú ọ dị, ọ bụghị mgbe nile ka anyị pụrụ ịmata mgbe nke a mere, dị ka Onyenwe anyị nke maara ihe nile pụrụ ime. Ma anyị pụrụ ịmụta ihe site n'ihe nlereanya Ya. Ọ dị anyị mkpa mgbe nile ime ka okwu banyere ozi ọma ahụ dị iche ma dị iche n'usoro izi ihe ime mmụọ. Anyị ekwesịghị iche na a mụwo nwoke ma ọ bụ nwanyị ọzọ nanị n'ihi na a na-ahụ ha n'etiti ndị na-eso ụzọ Kraịst. Nkwusa na izi ihe anyị kwesịrị ime ka o doo anya mgbe nile na ibụ ndị na-eso ụzọ adịghị azọpụta mmadụ.

N'ezie, ịbụ onye na-eso ụzọ abụghị ọnọdụ ma ọ bụ ihe àmà na-egosi na a na-amụ mmadụ ọzọ n'ezie. Ọ bụ nanị okwukwe n'ime Kraịst maka ndụ ebighị ebi na-eme ka a mụọ mmadụ ọzọ n'ezie. E kwesịghị ime ka onye ọ bụla anyị na-ezi ihe ma na-ekwusara ozi ọma chee echiche n'ụzọ ọzọ.

Ma, n'aka nke ọzọ, anyị ekwesịghị iche na onye "si n'usoro a pụọ" bụ onye a na-agaghị azọpụta. N'ezie, ọ pụrụ ịbụ na ha achọpụtawo na agụmakwụkwọ ime mmụọ ha na-agwụ ha ike karịa ka ha tụrụ anya ya; ọ pụrụ ịbụ na ha agụtaghị ihe ọ na-efu n'ụzọ ziri ezi.

Ọ dịghị onye ọ bụla nụrụ ka Jizọs na-ezi ihe n'ihu ọha, nke pụrụ iche na ọ dị mfe ma ọ bụ bụrụ ihe na-adịghị efu ihe ịbụ onye na-eso ụzọ Ya. Ịdọ aka ná ntị ya doro anya n'okwu a. Agụmakwụkwọ n'okpuru Ya bụ ihe na-achọsi ike, O kwukwara otú ahụ.

Anyị kwesịkwara ime otú ahụ. N'ezie, ọ bụ ọrụ dịịrị anyị ime ka ihe ndị a doo anya: Nzọpụta bụ n'efu n'ezie; ịbụ onye na-eso ụzọ abụghị n'efu ma ọlị.

# Isi Nke 8

## Agha Eze

O nweghị ihe Jizọs kwuru n’akpachapụghị anya. Ndi na-eso ụzọ ya gbadaa kemgbe ọtụtụ narị afọ aghọtawo eziokwu a. Ha amụtala na ihe niile Onye Nkuzi ha kụziri chọrọ ka e kwughachi ya na nlebazie anya nke ọma.

Nke ahụ bụ eziokwu n'ezie banyere okwu ndị Jizọs kwuru na-atụnyere iso ụzọ ya dika ibu agha. Ka anyị tụlee okwu ndị ahụ ọzọ:

> “Ma-ọbu òle eze, mḅe ọ nāga ibu agha megide eze-ibe-ya, nāgaghi-ebu uzọ nọdu ala ḅa ìzù ma ọ puru ichi orú nnù ndi-agha na nnù ise zute onye chiri ọgu nnù ndi-agha abua na nnù iri bia imegide ya?” (Luk 14:31)

Ihe dị n'okwu a na-adọrọ mmasị nke ukwuu.”Ịbụ onye na-eso ụzọ m,” Jizọs kwuputara, “dị ka ịbụ eze nke nọ n'agha na eze ọzọ. Ọzọkwa, eze onye iro ahụ dị ike dị ukwuu.

“Ịbụ onye na-eso ụzọ,” Onye-nwe anyi na-ekwu, “bụ agha eze. Ọ bụ esemokwu dị n'etiti eze abụọ.”

Ihe ndị ọzọ dị n'Agba Ọhụrụ na-enyere anyị aka ịghọta nke a n'ụzọ doro anya. Onye kwere na Jizos Kraist bu onye eze, nwa a mụrụ ọzọ nke Eze ebighebi. Ọzọkwa, onye kwere ekwe bụ akụkụ nke òtù ndị nchụàjà nke eze (1 Pita 2:9). Ọ bụrụ na onye ahụ kwere ekwe anọgide na-ekwesị ntụkwasị obi n'ụzọ ndị Kraịst, Chineke ekwewo ya nkwa ịbụ eze. Akwụkwọ Nsọ na-ekwu, sị: “Ọ bụrụ na anyị atachie obi, anyị ga-esokwa ya chịa” (2 Timoti 2:12).

Ma a na-amatakwa eze nke ọzọ n'ụzọ dị mfe. Ọ pụghị ịbụ onye ọzọ karịa “onye-isi nkè ụwa nka” (Jọn 14:30), “onye-isi nke ike nke mbara-elu-igwe ,mọ ahu nke nālusi ọlu ike nime umu nke ekweyeghi-ekwenye uḅu a”(Ndị Efesọs 2:2). Ọ bụ n'ezie “ ndị chi nke oge a” onye “mere ka anya nke uche nke ndi nēkweghi ekwe kpu ìsì n'etiti ha” ( 2 Kọr. 4:4 ). Ọ bụ Ekwensu n’onwe ya.

Ọ doro anya, na eze a nwere ọtụtụ ndị agha. Ọ bụghị naanị na ọ mere ka anya nke uche ndị na-ekweghị ekwe kpuo isi, ndị ọ pụrụ iji ike na-achị, ma ọ bụkwa onye isi ndị agha ime mmụọ dị ike bụ ndị na-arụ ọrụ n’okpuru iwu ya.

Onyeozi Pọl na-ekwu okwu n'ụzọ doro anya banyere ike karịrị nke mmadụ nke onye iro anyị. Na ime nke ahụ ọ kọwara ndụ Ndị Kraịst dị ka ibu agha. Okwu ya na-akpali íchè echiche ma na-akpali mmụọ:

> N'ihi na iḅa-nḅa-ayi abughi imegide anu-aru na ọbara, kama ọ bu imegide ibu-ndi-isi nile, imegide ichi-isi nile, imegide ndi-onwe-uwa nke ọchichiri a, imegide ndi-agha mọ nke ajọ ihe n'ebe di n'elu-igwe. N'ihi nka chilienu ihe-agha nile nke Chineke, ka unu we pu iguzogide ndi-iro-unu n'ajọ ubọchi, na iguzo, ebe unu luputaworo ihe nile (Efe 6:12-13).

Pọl kwuru na agha a dị adị, n'ezie. N'agha a, anyị na-alụso ndị iro siri ike ma nwee ike karịa anyị ọgụ. Ma anyị ka pụrụ inwe mmeri, ma ọ bụrụ na anyị ejiri enyemaka na ihe ndị Chineke nyeworo anyị mee ihe.

Ma anyị aghaghị iyi uwe agha Ọ na-enye. Ọ bụrụ na anyị emeghị, anyị na-akpọ òkù mmeri ngwa ngwa.

Ka a sịkwa ihe mere Jizọs ji gwa ndị ga-abụ ndi na-eso ụzọ Ya ka ha tụlee agụmakwụkwọ Ọ nyere dị ka ụdị esemokwu. Eze onye iro— Ekwensu n'onwe ya n'ezịe ga-abịakwasị ha na ike niile ọ nwere. Ọ ga-abụ ihe na-ezighi ezi ịghara ime ka nke a pụta ìhè.

Ma na Usoro Nzọpụta dabeere na ọrụ, egosighi ihe ndị a n'ụzọ doro anya ma ọlị. Kama nke ahụ, a na-ekpuchi ha n'ụzọ dị nwute.

Dị ka nkà mmụta usoro dabeere na ọrụ nke okpukpe, ọdịda nchekwa nke ọma n'ọsọ Ndị Nkè Kraịst na ibu agha Ndị Nkè Kraịst bụ ihe àmà na mmadụ abụghị onye amụrụ ọzọ n'ezịe. Ezi Ndị Kraịst niile na-ejedebe dị ka ndị mmeri, agwara anyị. Ezi ndị Kraịst na-ejedebe dị ka ndị na-emeri emeri. Ma ọ bụrụ na ịla n'iyi na ịda mbà abụghị ihe ga-ekwe omume nye Ndị Nke Kraịst, mgbe ahụ ọsọ na agha ahụ abụghị eziokwu.

N'eziokwu ụzọ iche echiche a na-eduga ná mmeri ngwa ngwa. Ọ ga-adị ka anyị ịhapụ ihe agha ime mmụọ anyị n'onwe anyị. Ihe ga-esi na ya pụta ga-adị nnọọ njọ, ọ ga-emekwa ka ndị iro anyị nwee ihe ịga nke ọma.

Okwu ndị a dị omimi bụ nke a ghaghị iji nlezianya tụlee.

*Obi Ike Na Ume Ime Mmụọ*

Onye isi agha ọ bụla nke na-arụ ọrụ nke ọma maara na obi ike na ume ndị agha bụ ihe dị mkpa ma ọ bụrụ na a ga-emeri. Ọ bụrụ na ndị agha nọ n'okpuru iwu ya daa mbà ma ghara inwe ume, mmeri nke ndị iro ga-abụ ihe a na-atụ anya.

Ihe Nzọpụta dabeere na ọrụ na-eme n'ezie bụ imebi obi ike nke Ndị Kraịst n'ụzọ dị oké njọ. Kama imesi obi ike na onye kwere ekwe bụ n'ezie nke Chineke n'agbanyeghị ihe ọ bụla merenụ, ndị nkụzi nzọpụta dabeere na ọrụ na-ekwu na Ndị Kraịst aghaghị igosipụta nzọpụta ha site n'ibi ndụ dị ka ndị mmeri. Ọ bụrụ na a zọpụta mmadụ n'ezie, a ga-ahụ nke a n'ụzọ o si emeri onye iro ahụ. N'ikpeazụ, ezi Ndị Kraịst na-enwe mmeri.

Ma ọ bụrụ na onye ahụ kwere ekwe adaa? Ọ dị mma, nke ahụ nwere ike ime mgbe ụfọdụ, ma "ọdịda" a gaghị eme mgbe dum ma ọ bụ nọgide ogologo oge. N'ime usoro ọrụ nke echiche nzọpụta dabere na ọrụ. ọ bụrụ na mmadụ ataa ahụhụ nke ukwuu ma ọ bụ ogologo oge ịda mbà ime mmụọ, mgbe ahụ, nzọpụta ha ga-abụ ihe a ga-enyo enyo. Ya mere, isi ihe dị n'ozizi nzoputa dabeere na ọrụ bụ na ihe e ji mara m dị ka Onye Kraịst dabeere n'otú m si alụ ọgụ.

Nke a dị ka ịgwa ndị agha ka ha lụọ ọgụ ike maka obodo ha ka site n'ịlụ ọgụ nkè ọma ha wéé gosi na ọ bụ n'ezịe obodo ha. Ma olee onye agha ga-etinye ndụ na akụkụ ahụ na ọgbọ agha maka ịhụnanya nke obodo na-enweghị ijide n'aka obodo ọ bụ?

N'ezie, onye agha e goro ego pụrụ itinye ndụ ya n'ihe ize ndụ ma ọ bụrụ na ego e nyere ya buru ibu. N'oge ochie, e nwere ọtụtụ ndị agha dị otú ahụ e goro ego bú ndị lụrụ agha nanị maka ego. Ma ọ bụrụ na onye agha na-alụ ọgụ nanị n'ihi ụgwọ a kwụrụ ya, o doro anya na e nwere ókè na iguzosi ike ya.

Nkuzi Usoro nzọpụta dabeere na ọrụ n'ezie na-eme ka ndị Kraịst bụrụ ndị agha na-alụ ọgụ naanị maka uru. Site n'echiche nzọpụta dabeere na ọrụ , ndị Kraịst ga-alụ ọgụ ike naanị ma ọ bụrụ na ihe ha ga-erite dị ukwuu nke ọma. Oleekwa ihe ndị dị n'ihe ize ndụ karịa eluigwe ma ọ bụ ọkụ mmuọ? N'ụzọ dị otú a, a na-atụgharị agha ahụ ịbụ ule nke nzọpụta mmadụ.

Otú ọ dị, ndị agha bú Ndị Kraịst abụghị ndị ọrụ e goro ego. Ha anaghị alụ ọgụ iji gosi nzọpụta ha, ma ya fọdụzie iji merie. Ha maara na ha bụ ndị obodo nke eluigwe, mmesi obi ike a bụkwa ihe mkpali mmụọ dị ike n'agha. N'ezie, otu n'ime akụkụ ndị a kasị eleghara anya n'ozizi

Akwụkwọ Nsó Agba Ọhụrụ bụ ókè ndị dere ya na-arịọ ndị na-agụ akwụkwọ ha ka ha nwee ntụkwasi obi banyere zọpụta ha. Ha na-eji mmesi obi ike a eme ihe dị ka ngwá ọrụ na-akpali akpali dị irè n'ịgba ndị kwere ekwe ume inwe mmeri ime mmụọ.

Otú ihe atụ a ma ama nke mkpali dị otú ahụ bu nkè onyeozi Pọl dekọrọ n'akwụkwọ ozi mbụ o degaara ndị Kọrint. Ọ na-ekwu banyere nsogbu nke mmekọahụ rụrụ arụ, bụ́ nke jupụtara nnọọ n'obodo Kọrint. Ọ na -ede: " Ùnu amataghi na aru-unu bu ihe di n'aru Kraist? m'gēwepu kwa ihe di n'aru Kraist, me ha ka ha buru ihe di n'aru nwanyi nākwa iko? Chineke ekwela! (1 Kor 6:15).

"Ùnu amataghị", ka Pọl na - ekwu, "na dị ka Ndị Kraịst anụ ahụ unu dị n'otu na Kraịst ?" N'asụsụ Grik, ụdị ajụjụ a na-egosi na ọ na-atụ anya ka mmadụ zaa ee. Mana ekwesịrị ịmara na ajụjụ a anaghị ajụ, "ọ bụ na imaghị na a zọpụtara gị?" Kama ọ na-ajụ, "Ọ̀ bụ na ị maghị ihe nzọpụta gị pụtara?"

Dị ka Ndị Kraịst, ka Pọl na-arụ ụka, anyị kwesịrị ịghọta na e jikọtara ahụ́ nkịtị anyị na Kraịst n'ụzọ ime mmụọ, n'ihi ya kwa, anyị kwesịrị ịkpachara anya ka anyị ghara iji ha na-eme omume rụrụ arụ.

Amaokwu ole na ole mgbe nke ahụ gasịrị, onyeozi ahụ kwukwara, sị:

> Ḅanarinu ikwa-iko. Nmehie nile ọ bula nke madu nēme di n'elu aru; ma onye nākwa iko nēmehie megide aru nke onwe-ya. Ma-ọbu ùnu amataghi na aru-unu bu ulo nsọ nke Mọ Nsọ, *Onye bi nime unu, Onye unu nwere site na Chineke? ọ bughi kwa unu onwe-unu nwe onwe-unu; n'ihi na ewere ọnu-ahia ḅara unu:* ya mere nyenu Chineke otuto n'aru-unu (1 Kor 6:18-20, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche).

Lee ka nke a si dị iche na mmụọ nke Usoro Nzọpụta dabeere na ọrụ. Pọl adịghị ekwu, dị ka ndị nkụzi nke Usoro dabeere na ọrụ na-emekarị, na ndị na-agụ akwụkwọ ha kwesịrị inwe obi abụọ banyere nzọpụta ha ma ọ bụrụ na ha etinye aka na mmekọahụ adịghị ọcha.

N'ụzọ megidere nke ahụ, Pọl na-ekwu maka eziokwu ahụ bụ́ na a zọpụtara ha dị ka isi ihe mere ha ji kwesị "gbanarị ịkwa iko." Ọ na-agba ha ume ilekwasị anya n'ịdị nsọ nke anụ ahụ ha dị ka ụlọ nsọ nke Mmụọ Nsọ. O gosiri ha ihe ha ga-akwụ iji ghọọ ihe onwunwe Chineke. Ọ na-ekwusi ike na omume ha kwesịrị ịkpali site n'eziokwu nke mmekọrịta ha na Onyenwe anyị.

Ruo ugbu a ka ndị nkuzi usoro nzọpụta dabeere na ọrụ enweghị nkwekọ ha na Akwụkwọ Nsó Agba Ọhụrụ na ha na-eche n'ezie ma ọ bụrụ na mmesi obi ike adabereghị na ezi ọrụ, mmadụ nwere ike ime mmehie!

Ma njehie dị na nke a bụ ihe doro anya. Mgbe Chineke nyere mmadụ mmiri nke ndụ n'efu, mmiri ahụ gāghọ "nime ya isi-iyi miri nāsuputa ri nne rue ndu ebighi-ebi" (Jon 4:14). Ọchịchọ omume nke dabeere n'ịghọta na ndụ Chineke dị n'ime anyị si otú a aghọ mkpesa omume ọma kachasị ike nke nwere ike ime. Ọ dịghị ihe ọzọ ọ bụ ma ọ bụghị ịrịọ arịrịọ maka eziokwu ahụ karịrị nke mmadụ nke isi iyi ndụ ahụ dị n'ime. Ọ bụ arịrịọ nye mmetụta anyị kachasị miri emi nke mmụọ.

Ya mere a pụghị iji égbè eluigwe na àmụ̀mà nile sitere n'Ugwu Saịnaị tụnyere nwa oge n'ike mkpali na "olu dị ntakịrị" nke ịhụnanya amara nke Chineke n'ebe anyị nọ n'ime Kraịst, nke na-abịa site n' ugwu Calvary.

*Bụrụ Ihe Ị Bụ*

Anyị aghaghị ikwu ya ọzọ. Ndị ode akwụkwọ Nsó agba ọhụrụ na-adabere ugboro ugboro agbamume ha maka ibi ndụ dị nsọ na amamihe nke onye na-agụ ya na mmesi obi ike nke amara nzọpụta Chineke. n'otu echiche ha na-agwa Ndị Kraịst banyere ya ọzọkwa, "Bụrụ ihe ị bụ!" Ma ọ bụ ikwu ya n'ụzọ ọzọ: "Ebe unu bụ Ndị Kraịst, bie ndụ dị ka Ndị Kraịst kwesịrị isi na -ebi ndụ."

Ọ gaghị ekwe omume n'akwụkwọ dị ka nke a ịkọcha ihe atụ nke ụdị ịdọ aka ná ntị a. Mana ekwesịrị ịkọwa ihe atụ ole na ole iji mesie isi ihe a dị mkpa ike. Ndị na-agụ ya ga-ahụ ọtụtụ ihe atụ ndị ọzọ ka ha na-enyocha Akwụkwọ Nsó Agba Ọhụrụ.

N'ịgba ndị Tesalonaịka ume ka ha ghara ịbụ ndị o mere n'amaghị ama bụ ọbịbịa nke Ụbọchị Onyenwe anyị, Pọl dere okwu ndị a:

> Ma unu onwe-unu, umu-nna-ayi, anọghi n'ọchichiri, ka ubọchi ahu we jide unu na mberede dika onye-ori*: n'ihi na unu onwe-unu nile bu umu nke ìhè,* na umu nke ehihie: ayi abughi ndi nke abali, ma-ọbu nke ọchichiri; ya mere otú a, ka ayi ghara iraru ura, dika ndi fọduru, kama ka ayi nēche nche nwe kwa anya-udo (1 Tesalonaika 5:4-6, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche).

Ọ dịghị mkpa ikwu ihe ọ bụla banyere akụkụ Akwụkwọ Nsọ a. "Adịla na-eleghara anya, dị ka ndị a na-azọpụtaghị," ka onyeozi dèrè", n'ihi na unu niile bụ nke ehihie na kwa ụmụ nke ìhè." "Bụrụ ihe ị bụ", ka Pọl na-ekwu.

Ọzọ onyeozi dere: " N'ihi n'oge gara aga, unu bụ ọchịchịrị, ma ugbu a, unu bụ ìhè n'ime Onyenwe anyị. Na-ebinụ ndụ ka ụmụ nke ìhè "(Ndị Efe 5:8).

"Bụrụ ihe ịbụ" Pọl kwuru.

N'otu aka ahụ bụ nkwupụta mbụ n'otu akwụkwọ ozi ahụ:

"nweritanu obiọma n'aru ibe-unu, nwenu obi ọmiko, were-kwa-nu amara ḅaghara onwe-unu, dika Chineke were-kwa-ra amara ḅaghara unu nime Kraist" (Ndị Efe 4:32). "A gbagharawo gị", ka Pọl na-ekwu. "Ya mere ugbu a, na-gbaghara ndị ọzọ."

N'ime otu akụkụ mara nnọọ mma, onyeozi ahụ si otú a kwuo ya:

> N'ihi na ala-ayi di n'elu-igwe uḅu a; site n'ebe ayi nēchesi kwa Onye-nzọputa ike, bú Onye-nwe-ayi Jisus Kraist: Onye gēme aru nke ọnọdu-ayi di ala ka o nwe oyiyi ọhu, ka ya na aru nke ebube-Ya we nwekọ otù udi, dika ilusi-ọlu-ike ahu si di nke O ji pu ọbuná ido ihe nile n'okpuru Onwe-ya. *Ya mere*, umu-nnam m'huru n'anya ndi agu unu nāgusikwam ike, ọǹùm na okpu-ezem, *guzosienu ike otú a* nime Onye-nwe-ayi, ndi m'huru n'anya ( Ndị Filipai 3:20---4:1, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche).

Kedu okwu na-agba ume nke a bụ nye ndị Kraịst nọ n'ọgbọ agha nke ndụ! "Dị ka ndị obodo nke eluigwe, akara aka anyị bụ ịbụ ndị a ga-agbanwe n'ụzọ dị ebube mgbe Kraịst ga-abịa", ka Pọl kwuru n'ụzọ doro anya. "*Ya mere*, guzosie ike n'ime Onyenwe anyị."

N'ụzọ doro anya, ọ dịghị ihe ọ bụla e kwuru n'ebe a banyere igosipụta ịbụ nwa obodo eluigwe anyị site n'ịnọgide na-eguzosi ike. Nke dị nnọọ iche bụ eziokwu. N'ụzọ ziri ezi n'ihi na anyị bụ ndị obodo nke eluigwe anyị kwesịrị iguzosi ike. Ndị ọzọ so dee Akwụkwọ Nsó Agba

Ọhụrụ kwekọrọ n'echiche Pọl. Ha onwe ha kwa na-agba ndị na-agụ ha ume dị ka ndị maaraworị na a zọpụtawo ha.

Anyị na mbụ kwuru otú onyeozi Pita na-agwa ndị na-agụ banyere onyinye dị ukwuu e nyere ha mgbe ha matara Kraịst. Na ndabere nke ndokwa a, ọ dụrụ ha ọdụ itinye "ịnụ-ọkụ-n'obi nile" n'usoro nke uto na mmepe ime mmụọ (2 Pita 1:3-7). Ma Pita mere otu ihe ahụ n'akwụkwọ ozi mbụ ya.

N'ihi ya Pita pụrụ ikwu, sị:

> N'ihi nka kenu ihe-ọkiké a n'úkwù nke uche-unu, nwe-kwa-nu anya-udo, lezu-kwa-nu anya okè n'amara nke anēwetara unu nime nkpughe nke Jisus Kraist; dika umu nke iṅa-nti, unu eme-kwa-la onwe-unu ka unu di ka agu ihe ọjọ ahu si di, bú nke guru unu na mbu n'amaghi-ihe-unu: kama dika Onye kpọrọ unu di nsọ, unu onwe-unu, ghọ-kwa-nu ndi di nsọ n'ibi-obi nile di iche iche; n'ihi na edewo ya n'akwukwọ nsọ, si, "Unu gādi nsọ; n'ihi na nsọ ka Mu onwem di" (1 Pita 1:13-16).

Nke a bụ n'ezie ihe agbamume mara mma. Ma ka a rịba ama na ọ dịghị ihe a na-eche n'echiche ebe a - ma e wezụga na ndị na-agụ ya bụ Ndị Kraịst! Ha nwere ihe ha ga-ezu ike na ya nke ọma ka ha na-atụ anya nlọghachi nke Onyenwe anyị. Ha bụ ụmụ Chineke, ndị a na-akpọ ugbu a n'ịdị nsọ. Ya mere, ha ekwesịghị ikwe ka ha bụrụ ndị na-agbaso ụdị ndụ ha biri na mbụ n'ụbọchị nke amaghị ihe ha.

Ihe dum nke odide a na-aga n'ihu na nghota nke ndi ode akwụkwọ na ndi na-agụ akwụkwọ ya na ndi na-agụ akwụkwọ bụ ndị amụrụ ọzọ n'ezie. Ekwukwara nke a kpọmkwem na 1 Pita 1:22-23. N'ezie, agbamume dabere na nnabata nke ndị na-agụ maka nzọpụta nke onwe ha, enwere ike ịchọta ihe fọrọ nke nta ka ọ bụrụ ebe ọ bụla mmadụ họọrọ inyocha akwụkwọ ozi Agba Ọhụrụ.

Nke a dịkwa na Jemes, onye akwụkwọ ozi ya mara mma enwewo ọtụtụ nsogbu site n'aka ndị na-akọwa asụsụ. Ọ na-ede:

> N'ihi na O zubere ya O were okwu nke ezi-okwu muputa ayi, ka ayi we buru otù aha nkpurú mbu nke ihe O kère èkè. Unu matara nka, umu-nnam ndi m'huru n'anya. Ma ka madu ọ bula buru onye nānu ihe ọsọsọ, onye nādighi ngwa ikwu okwu, nādighi kwa ngwa iwe iwe: n'ihi na iwe madu adighi-alu ọlu ezi omume Chineke (Jemes 1: 18-20, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche)

Jemes kwuru okwu a nkè ọma. "Amụwo anyị ọzọ site n'okwu nke eziokwu," ka o kwuru. "Anyị bụ ọbụna ihe atụ maka ihe Chineke ga-eme n'ime ihe nile O kere eke. Ya mere ana m agba unu ume ka unu bụrụ ndị na-anụ ọkụ n'obi na-ege ntị, ma na-ejide onwe unu n'ire na iwe."

Ihe ndị fọdụrụ n'akwụkwọ ozi ahụ na-egosi na ndị na-agụ akwụkwọ Jemes chọrọ ịdọ aka ná ntị ndị dị otú ahụ. Ma a mụọla ha ọzọ. Jemes n'onwe ya kwuru nke a ma kpọọ ha ụmụnna ọtụtụ ugboro. Ọ dịghị mgbe Jemes ma ọ bụ onye ọ bụla ọzọ so dee

akwụkwọ ozi Agba Ọhụrụ chere na ọ dị mkpa ịjụ ma ndị na-agụ akwụkwọ ha hà bụ ezi Ndị Kraịst.[1]

N'ụzọ dị iche iche, ya mere, ndị edemede na-agba ndị Kraịst ibe ha ume ka ha bụrụ "ndi nēṅomi Chineke. dika umu ahuru n'anya;" (Ndị Efe 5:1), na ibi ndụ "kwesiri ọkpukpọ nke akpọrọ unu" ( Ndị Efe 4:1).

N'ikwu ya n'ụzọ dị mfe, nkwa nzọpụta bụ ihe bụ isi na omume ọma nke Agba Ọhụrụ niile. Ọ bụ ebe ntụaka edoziri nke si na ya ka nrube isi Ndị Kraịst ga-esi pụta.

*Mmechi.*

Ya mere nkà mmụta okpukpe nke nzọpụta dabeere na ọrụ na-ekpughere Ndị Kraịst na mmeri ime mmụọ. Site n'iwepụ anyị ntụkwasị obi na-enweghị atụ nke nwere ndụ ebighi ebi, ọ na-emebi ala siri ike anyị chọrọ n'okpuru ụkwụ anyị.

N'ikwu ya n'ụzọ ọzọ, mgbe ozizi nzọpụta dabeere na ọrụ na-eme ka ndị mmadụ nwewe obi abụọ banyere ihe e ji mara ha dị ka Ndị Kraịst, ọ na-egbochi ha inweta ike ime mmụọ nke Chineke chọrọ ka ha nweta site n'ihe e ji mara ha dị ka Ndị Kraịst. N'ezie, ụdị ozizi dị otú ahụ na-atụghachi Ndị Kraịst azụ n'ụkpụrụ iwu bụ ndị mmadụ na-aghaghị ịchọ igosipụta mmekọrịta ya na Kraịst site na arụmọrụ na -aga n'ihu. Udo nke na-abịa site n'ịdị na-ezu ike nanị n'amara Chineke adịkwaghị.[2]

Pọl ebighị ndụ otú ahụ. Kama nke ahụ, ndụ ya gara n'ihu na-adabere n'ụkpụrụ nkwenye siri ike. Ọ na-eme ka nke a doo anyị anya n'ụzọ dị ike:

> N'ihi, na mu onwem sitere n'aka iwu nwua n'ebe iwu di, ka m'we di ndu n'ebe Chineke nọ. Akpọgidekọwo mu na Kraist n'obe; ọ bughi kwa mu onwem nādi ndu ọzọ, kama ọ bu Kraist nādi ndu nimem ma ndu ahu m'nādi n'anu-aru ubu a, anamadi ya n'okwukwe, bú nke m'kwere n'Ọkpara Chineke, Onye hurum n'anya, rara kwa Onwe-ya nye n'ihim (Ndị Gala 2:19-20).

Ma ọ bụrụ na ejighị m n'aka na akpọgidere mụ na Kraịst n'obe? Ọ buru na amaghim n'ezie na Kraist nēbi nimem? Oleezi otú m ga-esi nweta ihe ndị dị ebube dị otú ahụ, dị ka Pọl mere, maka ndụ nke okwukwe nke m ga-ebi kwa ụbọchị?

Ọ̀ bụ na o doghị anya na site n'ozizi nzọpụta dabeere na ọrụ, ihe ọ bụla na-egosi adịghị ike ime mmụọ dị n'ime m, ahụmahụ ọ bụla nke ọdịda na nkụda mmụọ, pụrụ inwe mmetụta na-ebibi ihe n'ụzọ dị ukwuu? N'oge na-adịghị anya, mmadụ ga-ajụ, sị: À zọpụtara m n'ezie? Ènwere m Kraịst n'ezie n'ime m ka m̀ na-achọsi mmeri ike n'ike m na-enwetabeghị? Obi abụọ na-eduga ná nkụda mmụọ, obi nkoropụ, na mmeri.

Ka onye ọ bụla ghara inwe echiche na-ezighị ezi. Nke a bụ kpọmkwem ọnyà nke ọtụtụ ndị dabara na ya n'ihi ozizi nzọpụta dabeere na ọrụ. Ndị na-akụzi ihe dị otú ahụ ga-aza ajụjụ dị ukwuu n'ihu Chineke. Ebe agha ime mmụọ ha jupụtara n'ihe ndị ha na-egbu.

Ma ọ dịghị mkpa ka ọ dị otú ahụ. Maka, Ịbụ onye na-eso ụzọ, anyị na-aga n'ihu dị ka eze iji lụso eze onye iro ọgụ. Anyị na-aga n'ihu kpọmkwem n'ihi na anyị bụ ụmụ eze nke eze eluigwe.

Na n'ihi na anyị *maara* ya!

# Isi Nke 9

## Ọta Nke Bú Okwukwe

N'etiti ihe ndị dị mkpa nke akụrụngwa ime mmụọ nke onye kwere ekwe chọrọ maka ọgụ ya megide onye iro, onyeozi Pọl na-egosi nke ukwuu "ota nke bú okwukwe." Okwu ya nke ọma bụ akụkụ nke nkọwa gbatịrị agbatị nke uwe agha Ndị Kraịst na Efesọs 6. Na ebe a onyeozi dere: "Tukwasi ihe nile ndia welienu ọta nke bu okwukwe, nke unu gāpu imenyu àkú-uta nile nēnwu ọku nke ajọ onye ahu nime ya." (Eph 6:16).

Site n'iji okwu ndị siri ike ma doo anya mee ihe, Pọl na-egosi na ya na-ekwu banyere ihe dị oké mkpa n'ihe ndị anyị ji alụ agha ime mmụọ. Dị ka onye agha ụkwụ nke oge ochie, Onye Kraịst ga-adabere nke ukwuu na akụrụngwa a mgbe ọ nọ n'etiti ọgụ.

N'ezie, àgwà dị mkpa nke ọta ahụ ka egosiri site n'aka Pọl na-ezo aka na akụ ọkụ nke Ekwensu. N'agha ndị a lụrụ n'oge ochie, ọ na-abụkarị ndị na-agba ụta na-awakpo ndị agha ji ụkwụ. Dị ka mgbapu akụ na-ezokwasi n'elu ha, ndị agha nwere ike bulie ọta ha n'elu isi ha maka nchebe dị mkpa. Ọbụna akụ nke nwere ire ọkụ nwere ike imenyụ ka ha si n'ọta n'awụpụ ma ghara imerụ ha ahụ

N'otu aka ahụ, ngwá agha ime mmụọ nke Ekwensu na-elekwasi anya na ebe Onye Kraịst kacha na-adịghị ike. Ọdịdị ọkụ ha, dị ka Pọl kọwara, na-egosi ikike ha ọ bụghị nanị imerụ ahụ, kama ịgba ọkụ. Ma onyeozi ahụ kwusiri ike na a pụrụ ime ka onye ọ bụla n'ime ha kwụsị – ma gbanyụọ –site n'enyemaka nke "ọta nke bú

okwukwe". N'ụzọ doro anya, ọta a pụrụ ikpebi otú agha ahụ ga-esi gaa.

Ọ ga-abụ ihe ijuanya ma ọ bụrụ na onye iro gbalịsie ike ịnapụ ọta a pụọ n'aka ndị Kraịst? Ọ bụghị ihe nchebe dị ka nke a ga-abụ ihe nke mwakpo site n'aka onye iro anyị kpebisiri ike imegide anyị?

N'ezie ọ bụ.

Otú ọ dị, ọ dị mwute ikwu na a naghị amata ihe jọgburu onwe ya nke mgbalị Ekwensu na-eme iji napụ anyị ọta a site n'ozizi nzọpụta dabeere na ọrụ. Ma ọ bụ, ọ bụrụ na a matara ya, a na-ele Onye Kraịst anya dị ka ebe e wusiri ike nke okwukwe nke na-apụghị imeri emeri.

Ọ bụ ihe na-agaghị ekwe omume, ka ndị nkụzi usoro nzọpụta dabeere na ọrụ na-agwa anyị , ka okwukwe nke onye kwere ekwe ka ọ daa kpamkpam. A pụghị ịnapụ Onye Kraịst ọta nke okwukwe n'aka ya n'ezie, n'ihi na ọ bụrụ na ọta ahụ efunahụ ya, otú ahụ ka echiche nke ọnọdụ a si dị, ọ bụghị n'ezie ọta ma ọlị ebe ọ bụ na onye ahụ a na-ekwu okwu ya abụghị onye kwere ekwe n'ezie![1]

N'ezie, echiche nke usoro nzọpụta dabeere na ọrụ tọrọ atọ site na ozizi okwukwe nke akwụkwọ nsó na-akwadoghi. Mmadụ nwere ike iji obi ya niile kweta na ya kweere na Kraịst. Ma, ọ bụrụ na onye ahụ mechara jụ okwukwe ya ma hapụ ihe ndị o kweere, a na-ekwu n'ezie na onweghi mgbe okwetere ma ọlị.

Nke a bụ ihe na-enweghị isi nke ime mmụọ na mmetụta uche. Onye ọ bụla na-eme ihe n'eziokwu ga-ekweta na o kwere ihe n'oge gara aga nke na-ekwetaghịzi ugbu a. Onye ọ bụla makwaara na ọ bụghị mgbanwe nile anyị na-eme n'ihe anyị kweere bụ mgbanwe site n'ihe na-ezighị ezi gaa n'eziokwu . Mgbe ụfọdụ , anyị na-ehie ụzọ banyere ihe anyị kweere ugbu a.

Ma ndị a dị mfe, nleba ányá nke ezi uche na-efunahụ ndị nkuzi Usoro nzọpụta dabeere na ọrụ. Chukwu, ha na-ekwu, na-ekwe ndị kwere ekwe nkwa ntachi obi n'okwukwe. N'ụzọ dị mwute, nkwuputa nkwenye a enweghị nkwado nke Baịbụl.[2]

N'ụzọ megidere nke ahụ, Akwụkwọ Nsó Agba Ọhụrụ na-eme ka o doo nnọọ anya na ichekwa okwukwe anyị na Chineke gụnyere mgba nke mpụtara ya enwéghị nkwa nanị site na eziokwu na a zọpụtara anyị. Kama, ịlụ ezi ọgụ nke okwukwe bụ ihe agha ime mmụọ ahụ bụ n'ezie. Iche echiche n'ụzọ dị iche, bụ ikpọta mmeri n'ọgbọ agha ime mmụọ.

Ya mere, anyị ga-eleba anya nke ọma na àmà nke Akwụkwọ Nsọ gbasara akụkụ a dị mkpa nke ibu agha onye Kraịst.

*A na-awakpo okwukwe*

Otu n'ime ihe ndị kasị awụ akpata oyi merenụ n'Akwụkwọ Nsọ Agba Ọhụrụ dum ka edekọrọ site n'aka Luk na isi nke asaa nke oziọma ya, ebe anyị gụrụ nke a:

> Ndi nēso uzọ Jọn we kọrọ ya akukọ bayere ihe ndia nile. Jọn, we kpọ madu abua biakute ya nime ndi nēso uzọ-ya, zigara Onye-nwe-ayi, si, “Gì onwe-gi bu Onye nābia, ma-ọbu na ayi nēle anya onye ọzọ?” Ma mbe ndikom ahu biakutere Ya, ha si, “Jọn Baptist ezìwo ayi biakute Gi, si, 'Gì onwe-gi bu Onye nābia, ma-ọbu na ayi nēle anya onye ọzọ?'“ (Luk 7:18-20).

Ọ na-eju anya mgbe mmadụ gụrụ ebe a na nke mbụ ya. Onye amụma ukwu ahụ, bụ́ onye mbute ụzọ nke Kraịst, na-ajụzi ajụjụ banyere Onye ahụ o ji obi ike dị ukwuu kwuo okwu banyere ya n'oge gara aga.

Lee ọdịiche dị n'akụkụ Akwụkwọ Nsọ Luk dere na okwu Jọn n'onwe ya e dekọrọ n'ozi ọma nke anọ! N'ebe ahụ, a gwara anyị na Jọn Onye Na-eme Baptizim kwuru okwu ndị a: “Le, Nwa-aturu Chineke, Nke nēbupu nmehie nke uwa!” (Jọn 1:29).

N'oge na-adịghị anya mgbe ahụ, Jọn gbara àmà n'ụzọ dị otú a:

> “Ekiriwom Mọ Nsọ ka O si n'elu-igwe nēfeda ka nduru; O we nọgide n'aru Ya. Mu onwem amaghi kwa Ya: ma Onye ziterem ka m'were miri me baptism, Onye ahu sirim, 'Onye ọ bula i gāhu Mọ Nsọ ka Ọ nēfedakwasi Ya, nānọgide kwa n'aru Ya, Onye ahu bu Onye nēji Mọ Nsọ eme baptism.' Mu onwem ahuwo kwa, ḅa kwa àmà na Onye a bu Ọkpara Chineke” (Jọn 1:32-34).

Ma ugbu a Jọn na-ekwu, site n'onu ndị ozi ya, “ “Ọ bụ gị bụ onye ahụ anyị na-ele anya ọbịbịa ya, ka ọ bụ onye ọzọ?” Ọdịiche ahụ dị ịtụnanya.

N'ụzọ doro anya, mgbe ahụ, nnukwu ohu Chineke a na-ajụ ajụjụ eleghị anya na o kpebiworo n'ụzọ siri ike ogologo oge gara aga. Ajụjụ ya bụ n'ụzọ doro anya ngosipụta nke obi abụọ banyere eziokwu ahụ nke a na-eji azọpụta ndị ikom na ndị inyom. N'oge a, Jọn na Mata enweghị ike ikwekọrịta, “E, Onye-nwe-ayi: Mu onwem ekwerewo na Gi onwe-gi bu Kraist-ayi, Ọkpara Chineke, Onye nābia n'uwa” (Jọn 11:27).

Jọn Onye Na-eme Baptizim nwere ezi ihe mere o ji kwere eziokwu a, karịa ọtụtụ ndị ọzọ. Nke a bụ n'ihi na, dịka àmà nke onwé ya si dị, ọ hụrụ Mmụọ Nsọ ka ọ na-agbadata dị ka nduru ma dakwasị Onyenwe anyị n'oge baptism Ya. Ọzọkwa, Chineke gwara Jọn na onye Mmụọ ahụ na-abịakwasị n'ụzọ dị otú ahụ bụ n'ezie Ọkpara Ya.

Ma ugbu a, eziokwu ahụ Chineke mere ka o doo ya anya nke ọma aghọwo ajụjụ magbagwoju ányá nye Jọn. Ihe a niile ọ̀ bụ eziokwu n'ezie, ka ọ̀ bụghị?

Ọ na-eju anyị anya mgbe anyị nụrụ banyere ihe a mere ná ndụ Jọn Onye Na-eme Baptizim. Ma n'otu oge ahụ, ihe ijuanya anyị abụghị ihe ezi uche dị na ya. Onye ọ bụla nke ghọtara ọbụna ntakịrị ihe banyere otú obi mmadụ si arụ ọrụ aghaghị ikweta na akụkụ a nke okwu Chineke na-ekpughe eziokwu miri emi banyere mgba ndị mmadụ na-agba n'ezie.

Obi abụọ pụrụ ịbịara anyị ọbụna n'oge kasị mma. Ma ọtụtụ mgbe, ọ na-abụ ihe na-esi n'ọnwụnwa na ihe isi ike ndị a na-enwe ná ndụ. Mmadụ pụrụ ọbụna ịkọwa ya dị ka otu n'ime akụ́ ụta na - ere ọkụ nke Ekwensu.

Jọn Onye Na-eme Baptizim ewedawo ala ọta nke okwukwe. Ọkụ malitere ịgba n'uche ya nakwa n'obi, ọ chọkwara nnọọ ka e mesie ya obi ike na ndụ ya na ozi ya abụghị nnọọ nnukwute ihie ụzọ.

Ihe ịrụ ụka adịghị ya na gburugburu ebe obibi Jọn mere ka mwakpo nke onye iro ahụ dịkwuo mfe N'ụlọ mkpọrọ ahụ gbara ọchịchịrị ma sie ike nke Herọd, Jọn dara ọrịa, nke a mekwara ka ọ dịrị Ekwensu mfe ịnwụde ya. Na ụfọdụ n'ime akụ́ ndị ahụ na - ere ọkụ ruru ebe ha na - aga ekwesịghị iju onye ọ bụla na - ele agha ime mmụọ anya otú kwesịrị ekwesị.

Ma ka ekwuo nke a n'ụzọ doro anya. N'oge ndụ ya nke Luk na-akọwara anyị, Jọn Onye Na-eme Baptizim *ekweghị*. N'ụzọ megidere nke ahụ, ọ na-enwe obi abụọ. Eziokwu ahụ ọ na-ajụ abụghị ihe ọzọ ma ọ bụghị eziokwu na-azọpụta ndụ nke onye nkwusa ozioma nke anọ kwusara: “Ma edewo ihe ndia n'akwukwọ, ka unu we kwere na Jisus bu Kraist ahu, Ọkpara Chineke; ka unu we nwe kwa ndu n'aha-Ya n'ihi na unu kwere “(Jọn 20:31).

Iji kwuo ya n'ụzọ doro anya, n'oge a dị oké mkpa, Jọn Onye Na-eme Baptizim *ekweghị na* Jizọs bụ Kraịst ahụ, Ọkpara Chineke. Kama, ọ na-ajụ ajụjụ banyere eziokwu a. Ọ nwere ndụ ebighị ebi? Ee.

Ọ bụ kpọmkwem n'ebe a ka echiche ọtụtụ ndị na-ezisa ozi ọma na-ata ahụhụ site na nkà mmụta okpukpe dị mgbagwoju anya n'ụzọ na-enweghị isi. Anyị ekwuola n'isiakwụkwọ bu ụzọ na Baịbụl na-egosi okwukwe nzọpụta dị ka ijide ihe Chineke Nyere.

Ịnata ihe a Chineke Nyere bụ ụzọ e si eme ka ma imụgharị mmadụ ma Ịgụ mmadụ dị ka onye ezi omume na-adịgide adịgide maka onye kwere ekwe.

Okwukwe na-azọpụta, anyị ahuwo, dị ka otu iko mmiri nke ndụ nke na-adịghị mkpa ka a ṅụọ ya ọzọ. Ọ dị ka otu anya elere na Jizọs Onye Nzọpụta, dịka ndị Izrel si lee agwọ ọla kọpa n'ọzara ma biri ndụ. Okwukwe na-azọpụta bụ oge dị oké mkpa nke ịnụ ihe ime mmụọ bụ́ mgbe olu Ọkpara Chineke na-eme ka e nwee mbilite n'ọnwụ ime mmụọ a na-apụghị ịgbanwe agbanwe.

A zọputaghi ayi site n'iṅu na iṅu na iṅu miri nke ndu. A na-azọpụta anyị nanị site n'ịṅụ ya.

A dịghị azọpụta ndị mmadụ site n'ilegide Jizọs anya. A na-azọpụta ha site n'ile ya anya N'okwụkwe.

Ndị ode abụ ekwuola ya nke ọma:

Ndụ dị n'ile onye ahụ akpogidere n'ógbè,
Ndụ dị n'oge a màkà gị;
Lee anya, onye mmehie, lee Ya anya ka a zọpụta gị,
Nye onye ahụ a kpọgidere n'osisi.

Lee! Lee! Lee ma dị ndụ!
Ndụ dị n'ile onye ahụ akpogidere n'ógbè,
Ndụ dị n'oge maka gị.
- Miss A.M. Hull na E.G. Taylor

*Ndụ dị n'ile anya.*

Jọn Onye Na-eme Baptizim na-eru nso n'ọgwụgwụ nke ndụ elu ala ya. “Ihe ahụ o ji okwukwe mee”, nke mere ka ọ dị ndụ ọzọ, bụ ihe merela eme. N'oge a, obi abụọ na mgbagwoju anya jupụtara n'echiche ya banyere Jizọs.

Ma onyinye nke ndụ ebighị ebi efunahụghị ya. “ N'ihi na nchèghari adighi n'onyinye-amara nile na ọkpukpọ nke Chineke” (Rom 11:29). Kama nke ahụ, Jọn tụfuru nanị ọta ya. N'ụzọ dị mma, o nwere ezi uche ịrịọ Onyenwe anyị ka o nyere ya aka inwetaghachi ya.

Ọ nwetaghachiri ya? Ka anyị nwee olileanya na ọ bụ otú ahụ. Okwu ndị Jizọs zitere ya nwere nkasi obi dị ike (Luk 7:22). Ma ka anyị kweta na akwụkwọ nsọ anaghị ekwupụta na o weghachiri ma ọ bụ na oweghachghị okwukwe ya. Ihe ndekọ Luk na nke Matiu dị na (Matiu 11:2–15), ha abụọ hapụrụ ajụjụ ahụ n'azaghị ya. N'ebe Akwụkwọ Nsọ na-ekwughị ihe ọ bụla, anyị kwesịkwara imechi ọnụ

Ụfọdụ ndị na-eche na ọdịda nke okwukwe dị ka nke Jọn pụrụ ime Onye Kraịst, ma ọ ga-adịru nanị nwa oge. A na-emesi anyị obi ike na onye a mụrụ ọzọ n'ezie ga-enwetaghachi okwukwe ya.

A pụrụ ịnwa anyị ịjụ: ruo mgbe ole ka ọdịda dị n'okwukwe pụrụ ịdịgide—otu ụbọchị, otu ọnwa, otu afọ, ma ọ bụ afọ abụọ? Ma ọ dịghị azịza nye ajụjụ dị otú ahụ. N'ihi nke ahụ, echiche bụ́ na Ndị Kraịst pụrụ ịkwụsị ikwere ihe nanị ruo nwa oge bụ ozizi nkà mmụta okpukpe na-enweghị ihe ndabere ma ọlị. Enweghị nkwado maka ya na Baịbụl ma ọlị.

*Okwukwe n’ime ọdachi ụgbọ mmiri*

Ná ngwụsị nke ndụ elu ala ya, Pọl degaara Timoti akwụkwọ ozi abụọ, nwa okorobịa ya na ya so na-ejiko ozi. N'ime ọtụtụ okwu ịma aka ndị ọ gwara onye ọrụ ibe ya a, anyị na-ahụ ndị a:

> Iwu a ka m'nēnye n'aka-gi idebe, nwam Timọti, dika amuma nile si di nke eburu uzọ bu bayere gi, ka i we were ha *bu agha ọma nka;* nēnwe okwukwe na ezi akọ-na-uche; nke ufọdu nupuru n'ebe ha nọ, *ụbọ-ha we kpùe n'ebe okwukwe-ayi di*: ndi Haimeniọs na Aleksanda nọ n'etiti ha; ndi m'rara nye n'aka Ekwensu, ka ewe site n'ahuhu zí ha ka ha ghara ikwulu Chineke(1 Tim 1:18-20 (agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche)).

Ihe odide Pọl a chọrọ nlebara anya kasị mie emie. “Ị nọ n'agha, Timoti.” Pọl na-agwa ya. “Ọ bụrụkwa na ị chọrọ ịlụ agha ga-aga nke ọma, ọ ga-adị mkpa ka ị nọgide na-enwe okwukwe na ezi akọ na uche. Amaara m banyere ụfọdụ ndị bụ́ ndị leghaara ezi akọ na uche ha anya ma si otú ahụ nwee ọdachi dakwasịrị okwukwe Ndị Kraịst ha. (E kwesịrị igosi na na nkebiokwu a “Inwe okwukwe na ezi akọ na uche, nke ... “ Okwu ahụ bú “nke” n'asụsụ Grik mbụ na-ezo aka na “ezi akọ na uche”)

Pọl, n'ezie, bụ onye njem ụgbọ mmiri nwere ahụmahụ. Tupu ya edegara ndị Kọrịnt akwụkwọ ozi ya nke abụọ, ụgbọ mmiri atọ ọ banyere kpuru n'ezie. (2 Ndị Kọrint 11:25) A kọwara ihe omume ọzọ n'ụzọ doro anya n'Ọlụ Ndị Ozi 27. Mgbe Pọl degaara Timoti akwụkwọ ozi a, ọ ga-abụ na ọ na-eche banyere otu ụgbọ mmiri ndị na-agba n'oké osimiri, bụ́ ndị na-atụ ụdị egwu a.

Ọ bụ ezie na anyị apụghị ijide n'aka kpọmkwem ụdị ihe oyiyi a bụụrụ Pọl, Otu aro, karịsịa, bụ nnọọ ihe ezi uche dị na ya. Ọ pụrụ ịbụ na Pọl na-eche banyere “okwukwe na ezi akọ na uche” dị ka Mkpịsị ụgbọ mmiri abụọ, nke a ga-ejidesi ike ma na-akwọkwa n'otu oge ma ọ bụrụ na a ga-eduzi ụgbọ mmiri ahụ n'enweghị nsogbu. Ma ọ bụrụ na e wepụ otu mkpịsị ụgbọ mmiri ( mkpịsị ụgbọ mmiri nke “ezi akọ na uche”), mkpịsị ụgbọ mmiri nke ọzọ (mkpịsị ụgbọ mmiri nke “okwukwe”) enweghị ike ime ihe n'ụzọ kwesịrị ekwesị, na ụgbọ mmiri ahụ ga-etinye isi n'ihe ize ndụ nke oke nkume na ájá mmiri.

Ọ dịghị mkpa ikwu na Pọl agaraghị agwa Timoti okwu otú a ma a sị na o chere na ọ dịghị ihe ize ndụ dị n'ebe enyi ya n'eto eto nọ. N'ụzọ megidere nke ahụ, Pọl maara nke ọma na Ndị Kraịst anaghị enwe nchebe ida mba nke okwukwe ha.

N'ezie, o dokwara anya na o lere Haịmeniọs na Alegzanda anya dị ka Ndị Kraịst kpafuru akpafu. Asụsụ o ji kọwaa ha mere ka nke a doo anya. Pọl kwuru na ndị ikom abụọ a ka 'enyefere n'aka Ekwensu.' Ma nke a bụ kpọmkwem asụsụ o ji mee ihe banyere nwanna nwoke na-eme omume rụrụ arụ na Kọrint bu onye a ga-achụpụ n'ọgbakọ ụka n'ihi mmehie ya (1 Ndị Kọrint 5:1-5).

Nke a bụkwa ihe dị mkpa bụ nhọrọ okwu “mụta” iji kọwaa ebumnobi ahụmahụ ha n'okpuru ike siri ike nke Ekwensu. N'ezie, okwu Grik e ji mee ihe n'ebe a bụ nke a na-ejikarị akọwa ịdọ aka ná ntị ma ọ bụ “ịzụ ụmụaka” nke Ndị Kraịst. Ọ na - enye echiche nke ma ịdọ aka ná ntị ma ọzụzụ ime mmụọ . Pọl n'onwe ya jiri okwu ahụ mee ihe (1 Ndị Kọrịnt 11:13), site n'aka onye dere Ndị Hibru (12:6-11), na nke a na-ahụkwa n'akwụkwọ Mkpughe n'egbugbere ọnụ Jizọs: “ Ka ha ra, bú ndi Mu onwem huru n'anya, anamatu ha nmehie ha n'anya, zí kwa ha ihe site *n'inye ha ahuhu*” (Mkpughe 3:19, (agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche)

Ya mere, anyị nwere ike ịsụgharị echiche Pọl na-ekwupụta dị ka nke a: “Enyefewo m ndị a n'aka Ekwensu ka ha wee bụrụ ndị a zụrụ azụ ghara ikwulu Chineke.”

Ọzọkwa, anyị na-ahụ eziokwu doro anya nke Baịbụl. Ibu agha Ndị Kraịst abụghị egwuregwu nke mmeri na-adịghi na ya. Njem nke okwukwe ekwesighi ka eme ya n'echiche na-ezighị ezi na ụgbọ mmiri kpuru a gaghị ekwe omume nye ezi onye kwere ekwe.

Anyị chọrọ ịdọ aka na nti nke akwụkwọ nsó. Na n'echeche nke eziokwu ekwesiri ka a gwa anyị na e nwere ndị daranu dị ka–Haịmeniọs na Alegzanda.

Ikekwe Haịmeniọs n'ébé á bụ otu nwoke ahụ Pọl na-ezo aka na ya n'akwụkwọ ozi nke abụọ o degaara Timoti. Ọzọkwa, okwu onyeozi ahụ na-enye ìhè.

> “Ozizi ha ga-agbasa dị ka nsị, Haimeniọs na Filetus soo na ndị dị otu a. Ha ahapụla ịgbaso ụzọ eziokwu ahụ bido na-ekwusa okwu ụgha, na-asị na oge mbilite n’ọnwụ agafeela. *Site n’okwu ha, ha na-ekpu okwukwe mmadụ ụfọdụ ihu n’ala.* Ma ntọala Chineke hiwere na-eguzosi ike. N’elu ya ka eji ihe e dere kaa akara: “*Onyenwe anyị maara ndị bụ ndị nke ya,*” ya na, “Ka onye ọbụla kpọrọ onwe ya onye nke Kraịst kwụsị ibi ndụ ajọ omume.” (2 Tim 2:17-19, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche).

Ọ bụrụ n'ezie na anyị na-ekwu maka otu Hymenaeus ahụ n'amaokwu abụọ a, mgbe ahụ nsogbu Pọl kwuru okwu ya na Timoti nke mbụ dọrọ ányá. Hymenaeus hiere ụzọ n'ozizi site n'ikwu na mbilite n'ọnwụ abụghị nke gaje ime n'ọdịnihu, kama nke merela eme. N'ihi ya ọtara ahụhụ ụgbọ mmiri kpurunu “banyere okwukwe ahụ.” Ọzọkwa, Pọl lere ozizi ya banyere mbilite n'ọnwụ anya dị ka ụdị nkwulu nke kwesịrị ntaramahụhụ siri ike sitere n'aka Chineke. Ya mere e

nyefere Hymenaeus n'aka mwakpo nke ndị iro na-enwe olileanya na ha ga-eme ka ọ mara eziokwu ahụ nke ọma.

Ma ọ bụrụgodị na Haịmeniọs ahụ a kpọtụrụ aha n'akwụkwọ ozi nke abụọ o degaara Timoti abụghị otu onye ahụ, e nwere otu eziokwu nke okwu Pọl mere ka o doo anya. Ozizi ụgha Haịmeniọs banyere mbilite n'ọnwụ nwere mmetụta na-ebibi ihe n'okwukwe nke ụfọdụ ndị kwere ekwe. Ya na Faịlitos, Pọl kwuru, “ha na-ekpu okwukwe mmadụ ụfọdụ ihu n’ala.”.

N'ikwu ya n'ụzọ dị mfe, Haịmeniọs na Faịlitọs gọrọ agọ ma ọ bụ kọwahie ihe Jizọs gwara Mata: “ Mu onwem bu nbilite-n'ọnwu ... onye nēkwere na Mu, ọbuná ma asi na ọ nwuru anwu, ọ gādi ndu ọzọ” (Jọn 11:25). Ma ha gaara eme otu ihe ahụ maka okwu ndị a:

> Ma nka bu ihe Onye ziterem nāchọ, ka M'ghara itufu ihe ọ bula nime ihe nile O nyeworo m, kama ka *M'me ka o si n'ọnwu bilie n'ubọchi ikpe-azu* ( Jọn 6:39, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche), lee amaokwu 40).

N'ụzọ dị otú a, njehie ozizi nke ndị ikom abụọ a mere ka a ghara inwe ihe ndabere maka olileanya Ndị Kraịst. Ha gọnarịrị mbilite n'ọnwụ n'ọdịnihu nke Onyenwe anyị Jizọs Kraịst n'Onwe Ya kwere onye ọ bụla kwere ekwe ná nkwa.

Ụfọdụ Ndị Kraịst dabara n'ọnyà ha. Okwukwe ha na nkwa Jizọs kwụsịrị.

Nke a ò juru gị anya? Anyị ekwesịghị ịdị otú ahụ. Ọ dịghị ebe ọ bụla okwu Chineke kwuru na okwukwe onye kwere ekwe ga-adịgide.

Gịnị *ka* ọ na-eme ka anyị jide n'aka na ọ ga-eme? Na e meghị ka nzube Chineke ghara imezu site n'ọdịda nke nkwenkwe Onye Kraịst nwere banyere eziokwu ahụ. Ọ bụ kpọmkwem eziokwu a ka Pọl gara n'ihu igosi. “Ntọala Chineke” na-ekwusi ike na onyeozi “*guzosiri ike*.” Ọzọkwa, Dịkwa ka ntọala nke nnukwu ihe ncheta, ntọala a nwere ihe odide abụọ eji mechie ya.

Akụkụ mbụ nke ihe odide ahụ bụ nkwupụta na mmekọrịta dị n'etiti onye kwere ekwe na Chineke adịghị emetụta ya site n'ịtụfu okwukwe madụ. Pọl dèrè: “Chineke mara ndi bu ndị Ya.”

Lee okwu na-emesi obi ike nke ahụ bụ! Ọ bụrụ na ndị kwere ekwe echefuo ọta ha n'agha ime mmụọ ahụ, ha pụrụ ichefu n'obi ha na ha bụ nke Kraịst. Ma ọ bụrụgodị na ha echefuo, Onyenwe anyị ka maara. Nke ahụ bụkwa ihe dị mkpa n'ezie.[3]

Ma ọkara nke abụọ nke ihe odide ahụ nwekwara ike dị ukwuu. Ka anyị rịba ama na ihe Pọl kwuru ugbu a abụghị amụma kama ọ bụ iwu. “Ka onye ọ bụla nke na-akpọku aha Kraịst hapụ ajọ omume.”

Ihe ịrụ ụka adịghị ya, Onye Kraịst nke okwukwe ya funahụrụ nwere ike kwụsị ịkpọ aha Kraịst, ma ọ pụkwara ọ bụna ịkwụsị ikwupụta Iso Ụzọ Kraịst. Ma nke ahụ abụghị ọkpụkpọ òkù nke ịla azụ na akụkụ ndị ka na-akpọku aha áhụ.

N'ụzọ megidere nke ahụ, ihe Chineke chọrọ bụ otu ihe ahụ n'agbanyeghị onye okwukwe ya dara. Há kwesịrị ịhapụ ajọ omume. N'ezie, iwu a sara mbara dị ka okwu ahụ bụ́ “ajọ omume” n'onwe ya. N'agbanyeghị nke ahụ, dị ka ọdịdị ya na-egosi, Pọl bu n'uche karịsịa ajọ omume nke ozizi ndị na-emebi eziokwu ahụ (2 Timoti 2:14-16, 20-26).

Ka e wee ghara inwe mgbagwoju anya. Ịda mbà n'okwukwe mmadụ bụ ihe dị oké egwu nke pụrụ ime n'ọgbọ agha ime mmụọ. Ịgọnahụ nke a bụ ịghara ịdị njikere n'ụzọ ime mmụọ maka mwakpo nke onye iro.

Mana n'otu aka ahụ, ikweta na ọ bụ eziokwu apụtaghị na anyị kwesịrị ikwe ka ụgha Ekwensu mata anyị n'ọnyà. Ọchịagha a ka na-ama anyị aka iguzosi ike megide onye iro anyị. Ọ ka na-achọ ka anyị na-erubere eziokwu ya isi.

Ọkpụkpọ òkù ya ka nwere ike ida na ntị anyị: “Ka onye ọ bụla nke na-akpọku aha Kraịst hapụ ajọ omume.”

*Mmechi.*

E kwuwo na Hudson Taylor, bụ́ nwoke ukwu ahụ nwere okwukwe bụ́ onye guzobere China Inland Mission, weere 2 Timoti 2:13 dị ka otu n'ime amaokwu ndị bụ́ isi ná ndụ ya. Okwu ndị dị n'amaokwu a bịara n'obere tupu akụkụ Akwụkwọ Nsọ anyị ka tụlere. Okwu Pọl kwuru n'ebe ahụ bụ ihe a na-agaghị echefu echefu. O dere: “asi na ayi ekweghi ekwe, [KJV =“ekweghi ekwe”], Ya onwe-ya nānọgide n'ikwesi ntukwasi-obi; n'ihi na Ọ pughi igọnari Onwe-ya.” (2 Tim 2:13).

Site na nkwupụta a dị omimi Hudson Tylor nwetara ike dị ukwuu. Site na ya, ọ bịara ghọta na ikwesị ntụkwasị obi nke Chineke bụ ihe na-adabereghị na ntụkwasị obi nke onwere n'iguzosi ike ahụ. Ọbụna mgbe Taylor *na-ekweghị*, Chineke nọgidere na-ekwesị ntụkwasị obi!

Ọtụtụ Ndị Kraịst na-eche na eziokwu nke ahụmahụ ha na Chineke na-adabere na nkwụsi ike nke okwukwe ha. Ọ bụ eziokwu, n'ezie, na a na-azọpụta anyị site n’okwukwe. N'ihi ya anyị na-anabata onyinye nke bụ n'efu n’ezie. Ma ozugbo anyi nabatara ya, eziokwu nke nzọpụta anyị adabereghị n'ọtụtụ ntụkwasị obi anyị nwere n'eziokwu ahụ.

N'ikwu ya n'ụzọ ọzọ, Onyenwe anyị Jizọs Kraịst ekwewo anyị nkwa siri ike. Anyị tụkwasịrị Ya obi, Ọ na-ekwe nkwa na anyị nwere ndụ ebighi ebi (Jọn 6:47)— a gaghị amakwa ya ikpe (Jọn 5:24)— m ga-eme ka ha site n’ọnwụ bilie n’ụbọchị ikpeazụ. (Jọn 6:39-40). Ọ bụrụgodị na anyị akwụsị ikwere ihe ndị a nile, *Ọ na-anọgide na-ekwesị ntụkwasị obi*![4]

Ọ bụrụ na ọ ghara imezu nkwa ndị ahụ, ọ pụtara na ọ na-agọnahụ àgwà ya na ikwesị ntụkwasị obi ya. Ma dị ka onyeozi ahụ kwuru, *Ọ pụghị ịgọnahụ Onwe ya.*

Eziokwu a ọ̀ na-eme ka anyị daa mbà n'agha ahụ? O doro anya na ọ bụghị. N'ezie, dị ka Hudson Taylor mụtara, ọ na-eme n'ezie ka obi anyị sie ike maka esemokwu dị n'ihu anyị.

Ọ ga-enyere anyị aka nke ukwuu ịghọta na eziokwu nke Chineke bụ eziokwu ọbụna mgbe anyị na-ekweghị na ya. Eziokwu ahụ adịghị elekwasị anya n'ime anyị dị ka a ga-asị na okwukwe anyị nwere ike ịmepụta ma ọ bụ bibie eziokwu ahụ. Kama nke ahụ, eziokwu na-adịgide adịgide. Okwukwe bụ nanị ịnakwere àmà Chineke na-agba banyere eziokwu. Ma ọ bụrụ na anyị ajụ ihe àmà ahụ, ọ gaghị emetụta eziokwu ahụ n'onwe ya.

Anyị kwesịrị iburu nke a n'uche. Ịmara nke a na-enyere anyị aka ijidesi ọta nke bú okwukwe ike.

# Isi Nke 10

# Ọ Bụ Gị Ga-Ekpebi

N'otu akụkụ Akwụkwọ Nsọ, bụ́ nke anyị tụleworo ná mkpirikpi, Pita onyeozi na-agba ndị Kraịst na-agụ akwụkwọ ya ume ịzụlite okwukwe ha. Usoro a dị oke mkpa, na ọ na-agba ha ume "Iguzosi ike" iji mezuo ya.

Dika Pita siri kwuo, mgbe Chineke zoputara ayi, "ike nke Chineke" nyere ayi ihe nile ayi choro maka "ndu na nsọpuru Chineke" (2 Pita 1:3).

N'ihi ya, Chineke na-atụ anya ka anyị jiri ihe ndị a na-eme ihe ndị ga-abara anyị uru dị ka Ndị Kraịst.

Ya mere, anyị ga-eji ịdị uchu na-agbakwunye omume ọma n'okwukwe Ndị Kraịst anyị (2 Pita 1:5), ma anyị agaghị akwụsị ebe ahụ. Pita na-agwa anyị na a ghaghị ịgbakwunye amamihe, nakwa njide onwe onye, ntachi obi, nsọpụrụ Chineke, ịhụnanya ụmụnna, a ga-etinyekwa ịhụnanya. (2 Pita 1:5-7). N'ezie, a na-atụkwasị àgwà nke ọ bụla n'elu nke ọzọ dị ka a ga-asị na a na-atụkwasị ọtụtụ ihe n'elu ibe ha.

N'ikwu okwu n'ụzọ dị otú a, n'ezie, onyeozi ahụ bu n'uche n'ụzọ doro anya àgwà Ndị Kraịst tozuru okè, nke e meworo ka o zuo ezuo bụ́ nke Chineke na-atụ anya ka onye kwere ekwe ọ bụla wulite na ntọala nke okwukwe ya. N'ezie, mgbe o kwusịrị nke a, Pita dere okwu ndị a dị ịrịba ama: "N'ihi na asi na unu nwere ihe ndia, asi kwa na unu nwere ha ri nne, ha nēdo unu ndi nābughi ndi nādighi-alu ọlu ma-ọbu ndi nādighi-ami nkpuru rue imazu Onye-nwe-ayi Jisus Kraist." (2 Pita 1:8).

"Ihe bụ́ isi na-eme ka Ndị Kraịst na-amị mkpụrụ", ka onyeozi ahụ na-ekwu, "dị kpọmkwem n'àgwà ndị ahụ m ka gwara unu ka unu tụkwasị n'okwukwe unu. Site n'inwe ihe ndị a ugbu a ma nwee ahụmahụ n'ụba, ị gaghị ebi ndụ na-adịghị amị mkpụrụ ma ọ bụ nke na-adịghị arụpụta ihe."

Ma ọzọkwa, dị ka ndị ọzọ nile so dee Agba Ọhụrụ, Pita adịghị ele ihe ọ bụla Onye Kraịst na-achụso ịdị nsọ anya dị ka ihe dị otú o kwesịrị. N'ezie, ọ bụ ihe a na-achọsi ike ka onye ọ bụla kwere ekwe ghara ịbụ "onye na-amụghị nwa ma ọ bụ onye na-adịghị amị mkpụrụ." Àgwà ndị ahụ onyeozi ahụ kpọtụrụ aha, ọ bụrụ na e tinye ha ná ndụ ya, ga-eme ka e jide n'aka na ọ bụghị ya.

Ma Pita nwekwara ike icheta ihe ọzọ merenụ. Ọ kọwara ya n'ụzọ dị otú a: "N'ihi na onye ahu ihe ndia nādighi ya nso bu onye kpuru ìsì, onye nāhu inyoghi-inyoghi, ebe ọ chezọrọ nsachapu nke nmehie ochie ya nile." (2 Pita 1:9)

O doro anya na onyeozi ahụ adịghị ekwu banyere ndị a na-azọpụtaghị. *N'ezie*, ndị a na-azọpụtaghị enweghị àgwà ime mmụọ ndị a. Ọ dịghị mkpa ka Pita kwuo nke ahụ. Kama nke ahụ, o doro anya na ọ na-eche banyere onye a zọpụtara, n'ihi na ụdị onye ọ na-eche banyere ya enwetawo mgbaghara Chineke, ma bụrụ onye "asachara mmehie ya ochie."

Ma, n'ụzọ dị mwute, onye dị otú ahụ echefuola amara Chineke nke na-agbaghara mmehie n'oge gara aga. Ebe enwere ọhụụ ime mmụọ na mbụ, ugbu a, e nwere adịghị elepụ anya n'ihu na enweghị ike ịghọta ihe n'ụzọ doro anya. Nke a bụ kpọmkwem n'ihi na àgwà ndị dị oké ọnụ ahịa bụ́ ndị na-eme ka onye kwere ekwe na-amị mkpụrụ na-adị ụkọ n'ụzọ dị mwute.

N'ụzọ doro anya, ebe àgwà ndị a na-adịghị, mkpụrụ ya adịghịkwa.

Lee ihe ijuanya ọ bụ na n'oge anyị a, a na-agwakarị anyị na enweghị mkpụrụ bụ ihe àmà doro anya na a zọpụtaghị mmadụ. N'ezie, anyị esighị na Akwukwo Nso nweta echiche a. Kama

nke ahụ, Bible na-akụzi na onye kwere ekwe ịbụ onye na-adịghị amị mkpụrụ bụ ihe àmà doro anya na ọ dịghịzi aga n'ihu, na ọ dịghịzi etolite na Kraịst. Ọ bụ ihe àmà na-egosi na Onye Kraịst ahụ na-arịa ọrịa n'ụzọ ime mmụọ, ruo mgbe ọ gbakere, ọ pụghị inwe ihe ịga nke ọma n'ụzọ ime mmụọ.

N'ụzọ dị iche, echiche nzọpụta dabeere na ọrụ, na e ji nwayọọ nwayọọ n'ewebata echiche ndị America banyere ihe ịga nke ọma na Chọọchị. N'ezie, a gwara anyị na Chineke bụ nanị Chineke nke ndị nwere ihe ịga nke ọma n'ụzọ ime mmụọ. ọ bụ nanị onye kwere ekwe nwere mmeri pụrụ ijide n'aka n'ezie na Chineke hụrụ ya n'anya.

Kedụ maka akụkọ ihe mere eme dị egwu nke mba Izrel? Ọ̀ bụ na Chineke etinyeghị aka n'ihe ha na-eme? Aha ya ọ̀ ga-ala n'iyi n'ihi na ha emelighị ya? O doro anya na ọ bụghị.

N'ezie, otu nkà mmụta okpukpe ahụ nke na-agwa anyị na Chineke na-anabata nanị ọdịda ndị a kpaara ókè n'ime ezinụlọ Ya na-agwakarị anyị ihe ọzọ. Ọ na-agwakarị anyị na Kraịst agaghị anwụ n'ezie maka mmehie nke ndị ga-emesị jụ Ya. Ya mere, n'echiche a, Onyenwe anyị nwụrụ nanị maka ndị a họọrọ ọ bụghị maka ụwa dum.

Nsogbu dị ebe a dị mfe. Echiche nke Usoro nzọpụta dabeere na ọrụ anaghị aghọta ọdịdị nke amara. Ọ ghọtaghị na Chineke nwere ike iji mmesapụ aka hụ ndị ikom na ndị inyom n'anya bụ́ ndị mechara nwee ndakpọ olileanya n'ime Ya. Nkà mmụta okpukpe nzọpụta dabeere na ọrụ na-enwe ahụ iru ala nanị site n'iwu iwu kwadoro, "Mee nke a, ị ga-adị ndụ".

Ọ dịghị onye pụrụ inwe obi ụtọ na e nwere ndị Kraịst kwekọrọ ná nkọwa ahụ Pita nyere anyị na 1:9 nke akwụkwọ ozi ya nke abụọ. Ma ọ dịghị ihe a na-enweta site n'ịgọnahụ eziokwu a, a pụkwara itufu ọtụtụ ihe site n'ime otú ahụ.

Ọ bụrụ na a pụghị ịlụ agha anyị n'ụzọ dị irè n'enweghị ihe ize ndụ nke ịbụ ndị e meriri, otu ihe ahụ bụ eziokwu n'ebe a. Ịmị mkpụrụ abụghị ihe na-eme na onwe ya ná ndụ Onye Kraịst. Kama nke ahụ, ọ bụ ngwaahịa nke itinye "nnọsi ike niile" (2 Pita 1:5) na mmepe nke usoro zuru oke, àgwà Ndị Kraịst na-arụpụta ihe.

E nweghị ụzọ mkpirisi. Ọ dịghị usoro ọ bụla dị mfe. Ọ bụrụkwa na anyị adịghị anụ ọkụ n'obi, dị ka Pita nyere anyị iwu ka anyị na-eme, n'oge na-adịghị anya anyị pụrụ ịhụ onwe anyị ka anyị na-awagharị n'ọzara ime mmụọ, bụ́ ebe a na-apụghị ịchọta mkpụrụ bara ụba nke ahụmahụ ndị Kraịst. Ma ọ bụrụ na anyị elee ihe ize ndụ a anya n'ihu, anyị pụrụ izere ya.

### *Ihe Ize Ndụ Dị n'Emeghị Ihe*

Otu n'ime ihe ịrịba ama ịdọ aka ná ntị ndị Akwụkwọ Nsọ nyere anyị n'ụzọ doro anya bụ ihe ize ndụ nke ịnọ nkịtị n'ụzọ ime mmụọ. Ndị leghaara ịdọ aka ná ntị a anya pụrụ ịchọpụta n'oge na-adịghị anya na ifufe oyi nke adịghị arụpụta ihe na adịghị amị mkpụrụ na-emebi ndụ ha.

Anyị ahụworị okwu Pọl gwara Taịtọs na-agba ya ume ka ọ gbaa ndị kwere ekwe ume ka ha 'kpachara anya ịnọgide na-arụ ezi ọrụ' (Taịtọs 3:8). Ma nke a abụghị isiokwu dịpụrụ adịpụ na Pọl, na n'otu akụkụ Akwụkwọ Nsọ a na-agaghị echefu echefu n'ezie, o dekwara, sị:

> N'ihi nka, umu-nnam ndi m'huru n'anya, nēguzosinu ike, buru ndi anāpughi ime ka ha maa jijiji, *ndi nālubiga ọlu Onye-nwe-ayi ókè mḅe nile*, ebe unu matara na ndọḅu unu nādọḅu onwe-unu n'ọlu abughi ihe-efu nime Onye-nwe-ayi. (1 Ndị Kọrịnt 15:58 agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche)

Anyị kwesịrị ịmara ihe ndị gbara okwu ndị a gburugburu. Ha na-esochi mkparịta ụka dị ogologo nke Pọl na-emesi ike eziokwu nke mbilite n'ọnwụ anụ ahụ n'ọdịnihu (1 Ndị Kọrịnt 15:1-

57). Ọ bụrụ na ndị na-agụ ya echefuo eziokwu ahụ, mgbe ahụ mkpali ha maka ịnọgide na-arụ ezi ọrụ ga-agbagọ (1 Ndị Kọrịnt 15:32). N'ezie, a pụrụ imebi okwukwe ha nwere n'ebe Kraịst nọ dị nnọọ ka e mere ndị ahụ mesịrị gee Haịmeniọs na Faịlitọs ntị. (2 Timoti 2:17-19) Ọ bụ ezi nchegbu kpaliri Pọl inye ndụmọdụ a.

Dịkwa ka Pita onyeozi, Pọl makwaara nke ọma na Ndị Kraịst pụrụ ịghọ ndị na-adịghị amị mkpụrụ. N'ihi ya, na-agwa Taịtọs okwu ọzọ, o kwuru nke a: "Ka ndị nke anyị mụtakwa ijigide ezi ọrụ, igbo mkpa ndị dị mkpa, *ka ha wee ghara ịbụ ndị na-adịghị amị mkpụrụ.*" (Taịtọs 3:14 agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche)

N'ihi ya, ebe tọgbọrọ n'efu nke ibi ndụ ịta ahụhụ bụ ezigbo ihe ize ndụ dị ugbu a nke ndị dere Akwụkwọ Nsọ Agba Ọhụrụ ji obi eziokwu chee ihu.Ọ dịghị ụzọ ọ bụla ha si kwenyere n'echiche ụgha nke oge a bụ́ na onye kwere ekwe apụghị ịbanye n'ala ahụ tọgbọrọ n'efu, ma ọ bụ biri n'ebe ahụ. Ebe ọ bụ na ndụ ndị Kraịst bụ ọgụ ime mmụọ kpụ ọkụ n'ọnụ, ndị so dee Baịbụl maara nke ọma na a pụrụ inwe ndị ga-enwe ihe mmerụ ahụ. Nke ahụ bụ otu ihe mere ha ji bụrụ ndị ukọchukwu dị irè.

Ma n'ime ndị nile so dee Agba Ọhụrụ, onye kasị dọọ aka ná ntị n'ụzọ siri ike megide adịghị ike ime mmụọ bụ Jemes, onye otu nne ji ya na Onyenwe anyị. Ihe ndị ọ kụziri n'okwu a doro nnọọ anya, a gaghịkwa echefu ha echefu.

Dị ka o kwesịrị ịdị, Jemes maara na a mụọla ya na ndị na-agụ akwụkwọ ya ọzọ. N'ezie, ọ na-ekwu otú ahụ: "N'ihi na O zubere ya O were okwu nke ezi-okwu muputa ayi," (Jemes 1:18). Ma ọ makwaara otú o si dị ya na ha mkpa ịdị njikere mgbe nile ige ntị n'okwu Chineke.

N'ihi nke ahụ, Jemes dere ihe ndị a: "Ya mere, wepụnụ adịghị ọcha nile na ihe ọjọọ nile na-aba ụba, werekwanụ obi dị umeala nabata okwu ahụ a kụrụ n'ime unu, nke pụrụ ịzọpụta mkpụrụ obi unu." (Jemes 1:21).

Anyị aghaghị ịkpachara anya ka anyị ghara ịghọtahie okwu ndị a. N'asụsụ Bekee nke oge a, nkebi ahịrịokwu ahụ bụ́ "ịzọpụta mkpụrụ obi unu" nwere nanị otu ihe ọ pụtara nye ọtụtụ ndị. Ọ pụtara "ịzọpụta mmadụ n'ọkụ ala mmụọ".

Ma nke ahụ *abụghị* ihe ọ pụtara nye Jemes ma ọ bụ onye ọ bụla n'ime ndị na-agụ ya. N'asụsụ Grik nke Jemes ji dee akwụkwọ ya, nke a bụ okwu a na-ejikarị eme ihe nke pụtara "ịzọpụta ndụ unu". Ọ dịghị ebe n'ime Akwukwọ nsọ dum—n'Agba Ochie ma ọ bụ n'Agba Ọhụrụ—nkebi ahịrịokwu a pụtara "ịzọpụta site n'ọkụ ala mmụọ". Ọ pụtaghịkwa nke ahụ ebe a.

Jemes na-agwa ndị kwere ekwe a mụrụ ọzọ okwu (Jemes 1:18), ndị mkpụrụ nke Okwu Chineke nke dị ndụ abụrụla nke a "kụnyere" n'ime ha site na mmeghari ọhụrụ. Ọzọkwa, ọ nọwo na-adọ ha aka ná ntị banyere eziokwu ahụ bụ́ na nmehie, mḅe o tozuru okè, na-amuputa ọnwu. (Jemes 1:15). O kwetara ihe Pọl kwuru "asi na unu nādi ndu dika anu-aru si chọ, unu gaje inwu" (Ndị Rom 8:13a).

Ma ọ dịghị mkpa na ọ ga-adị otú ahụ. Ọ bụrụ na ndị na-agụ akwụkwọ ya ahapụ ajọ omume ọ bụla na-emetụta ha, ma jiri obi umeala na-anata Okwu Chineke, a pụrụ ịzọpụta ndụ ha pụọ n'ịṅwụ n'oge na nke na-ekwesịghị ekwesị site na mmehie. N'ime mmụọ nke akwụkwọ Ilu, Jems kwenyere na "Egwu Jehova nātukwasi ubọchi na ndu madu: Ma arọ nile nke ndi nēmebi iwu gādi nkpunkpu." (Ilu 10:27; lee 11:19; 12:28; 13:14; 19:16).

Ọzọkwa, Jemes gaara anabata nkwupụta Pọl, "ma ọ buru na unu nēwere Mọ Nsọ me ka omume aru nwua, unu gādi ndu" (Ndị Rom 8:13b)[1]

Ma iji rite uru 'na-azọpụta ndụ' nke site n'Okwu Chineke e tinyere n'ime ha, e nwere otu ihe dị mfe, ma bụrụ nke a na-apụghị izere ezere. Jemes kwupụtara ya n'ụzọ doro anya n'amaokwu na-esonụ: "Ma ghọnu ndi nēme okwu ahu, unu abu-kwa-la ndi nānu náni, ndi nārafu onwe-unu" (Jemes 1:22).

Jemes na-ekwu na o zughi Onye Kraịst nanị ịnara Okwu Chineke. Ọ dịghị ezu nanị ịnụ ntụziaka ya. Iji rite uru na ya—ịgbatị ndụ mmadụ site na ya—onye ahụ ga kwa na *eme* ya.

N'ikwu ya n'ụzọ ọzọ, a chọrọ ọrụ. Irube isi dị oké mkpa ma ọ bụrụ na mmadụ chọrọ inweta ngọzi ndị eziokwu Chineke pụrụ iwetara anyị.

Ya mere Jemes gara n'ihu, sị:

> N'ihi na asi na onye ọ bula bu onye nānu okwu ahu, ma ọ bughi onye nēme ya, onye ahu yiri nwoke nke nēkiri iru-ya n'enyo, bú iru o nwere mḅe amuputara ya: n'ihi na o kiriri onwe-ya, ọ puwo kwa, ngwa ngwa o we chezọ aha madu ọ bu. (Jemes 1:23-24)

Onye Kraịst ọ bụla maara ihe Jemes na-ekwu banyere ya. Lee ka o si dị mfe ige ntị n'ozi Baịbụl na-akpali akpali, ịhụ n'enyo nke eziokwu Chineke ihe m bụ n'ezie na ihe m kwesịrị ịbụ dị ka onye kwere ekwe na Jisọs Kraịst, ma si n'ụlọ chọọchị pụọ ma chefuo ihe nile banyere ya. Ka ọ na-erukwa n'ụtụtụ Mọnde, ọ dị nnọọ ka a ga-asị na anụtụbeghị m ozi ahụ ma ọlị.

Jemes na-ekwu, “Emela ụdị ihe ahụ. Na-eme ihe kwekọrọ n'eziokwu Chineke ma si otú ahụ na-enweta ngọzi ya.”

> Ma onye nyochaworo nime iwu zuru okè, bú iwu nke inwe-onwe-ya, nke nānọgide kwa otú a, ghara ighọ onye nānu anu nke nēchezọ, kama ọ bu *onye nēme eme nke nālu ọlu*, onye a gābu onye-ngọzi n'omume-ya. (Jemes 1:25 agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche)

Ọ dịghị ụzọ ọzọ. Ndụ ebighi ebi bụ onyinye dị mma na nke zuru oke nke Chineke nyere anyị (Jemes 1:17-18). Ọ bụ n'efu. Ma ngọzi Chineke n'ahụmahụ anyị dị ka Ndị Kraịst na-achọ *ọrụ*. Iji nwee ọganihu n'okwukwe, onye kwere ekwe aghaghị ime ihe karịrị nanị ige ntị n'eziokwu Chineke.

Onye kwere ekwe kwesịrị irube isi na ya.

### *Ihe Ize Ndụ Nke Okwukwe Odịnala Nwụrụ Anwụ*

Ma ọ bụrụkwanụ na onye ahụ kwere ekwe adịghị eme otú ahụ? Gịnị bụ ihe ndị na-esi n'ịghara ime ihe kwekọrọ n'Okwu Chineke nke na-enye obi ebere ma na-echebe ndụ apụta? N'ebe a kwa, Jemes nwere ihe ọ ga-agwa anyị.

Dị ka ndị nile so dee Akwụkwọ Nsọ Agba Ọhụrụ, Jemes kọọrọ ndị na-agụ akwụkwọ ya echiche dị elu banyere okwukwe. O nwere obi iru ala zuru oke n'akụkụ Akwụkwọ Nsọ dị mkpa nke Paul na-ekwu maka izi ezi nke Ebreham (Jenesis 15:6; Jemes 2:23).

Ma Jemes ghọtakwara otú ọ pụrụ isi dị mfe Ndị Kraịst, bụ́ ndị maara eziokwu ahụ dị mkpa bụ́ na Chineke na-anakwere anyị nanị n'ihi okwukwe, ịdaba ná mmehie nke ileda ọrụ ọma anya kpam kpam. Ọ ghọtara otú izi ezi n'ozizi pụrụ isi bụrụ ihe dị mkpa karịa nrubeisi dị irè, nke a na-eme kwa ụbọchị. N'igbu ya nkenke, ọ maara ihe ize ndụ dị n'ikwenye n'ihe ndị na-abụghị eziokwu.

Dị ka o kwesịrị ịdị, n'ọgbọ agha ime mmụọ anyị, onye iro anyị bụ́ Ekwensu na-achọsi ike ime ka ọta nke okwukwe anyị pụọ n'aka anyị. Anyị atụleworị eziokwu a n'isiakwụkwọ bu ụzọ. Onye Kraịst nke na-enweghị ọta ahụ nọ n'oké ihe ize ndụ n'ọgụ ya na Ekwensu na-alụ. O nweghị ụzọ ọ ga-esi gbanyụọ ọkụ onye iro ya na-agba.

Ma Ekwensu nwere ihe karịrị otu ụzọ o si alụso anyị ọgụ. Ọ bụrụ na anyị apụghị ịtọpụ ọta ahụ n'aka anyị, a ka pụrụ ime ka ọ ghara ịdị irè n'ụzọ ndị ọzọ. Otu ụzọ a pụrụ isi mee nke a

bụ ime ka anyị tinye ya n'ụlọ agha nkà mmụta okpukpe anyị ka anyị wee ghara iji ya mee ihe n'ọgbọ agha nke ndụ anyị na-adị kwa ụbọchị.

N'ụzọ dị mwute, ọtụtụ oge n'akụkọ ihe mere eme nke Chọọchị, Ndị Kraịst emewo ka okwukwe ha bụrụ nkwenkwe siri ike na nke na-adịghị ike nke na-enweghị ihe jikọrọ ya na ahụmahụ ha kwa ụbọchị. Ka ha ji mpako na-ekwupụta nkwenkwe ha, ma jiri obi ọjọọ na-akatọ ndị kweere ihe dị iche, ha na-ekwu okwu dị ka ndị ọkà mmụta okpukpe ma na-akpa àgwà dị ka ụmụ anụmanụ.

Ihe yiri nke ahụ nọ na-eme na Chọọchị ma ọ bụ na ọtụtụ Chọọchị ndị Jemes degaara akwụkwọ. Jemes kwuru okwu n'ụzọ na-akpali akpali banyere 'agha na ọgụ' ndị e nwere n'etiti ndị na-agụ akwụkwọ ya (Jemes 4:1). Ọ bụ ezie na dị ka Ndị Kraịst ha pụrụ ịbịakwute Chineke iji gboo mkpa ha, ha emeghị otú ahụ. Ma ọ bụ ọ bụrụ na ha mere, a jụrụ arịrịọ ha n'ihi na arịrịọ ndị ahụ bụ nke ịchọ ọdịmma onwe onye nanị: “Unu nālu ọ̀gù, nēbu kwa agha; unu enweghi, n'ihi na unu arịọghi. Unu nārịọ, ma unu adighi-anata ihe, n'ihi na unu nārịọ n'obi ọjọ, ka unu we mefu ya n'ihe-utọ nile unu.” (Jemes 4:2-3.).

Ọ bụghị onyonyo mara mma. Ma, ọ ka bụ ihe na-egosi Ndị Kraịst, bú ndị Jemes na-ewere di ka ihe doro anya na ha nwere ikike nke ekpere n’ebe a.[2] Ọ bụrụ na ha arịọ n'ụzọ ziri ezi, ha ga-enweta.

Dị ka a pụrụ ịtụ anya ya, ire bụ ngwá agha bú isi n'agha ndị a a na-alụ n'ime. Jemes ji ihe fọrọ nke nta ka ọ bụrụ otu isiakwụkwọ dum dọọ aka ná ntị banyere ihe ọjọọ obere ngwá ọrụ a pụrụ ịkpata (Jemes 3:1-12). Ndị na-agụ akwụkwọ ya, hà chọrọ igosi na ha maara ihe? Ka ha ghara iji ire ha mee nke ahụ. E nwere ụzọ ka mma: “Ònye bu onye-amam-ihe nke nāghọta kwa ihe n'etiti unu? ya site *n'ibi-obi ọma ya gosi ọlu-ya nile nime idi-nwayọ nke amam-ihe.*” (Jemes 3:13, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche)

“Okwu anaghị egosi n'ezie na ị maara ihe,” Jemes na-ekwu, “mana ezi ọrụ na-eme.” Olee ndụmọdụ ka mma ị ga-enye? Ihe ọ pụtara dị mfe: “Kwuo okwu obere, rubekwa isi karịa!”

Ma lee ka ọnọdụ ahụ megidere nke ahụ si bụrụ nke na-adịghị amịpụta mkpụrụ nke na-ebibi ihe. Jemes kọwara ya n'ụzọ doro anya, sị:

> Ma ọ buru na unu nwere ekworo di ilu na ikpa-iche-iche n'obi-unu, unu anyala isi, unu ekwu-kwa-la okwu-ugha megide ezi-okwu. Amam-ihe a abughi amam-ihe nke nēsi n'elu ridata, kama ọ bu nke uwa, buru kwa nke nkpuru-obi madu nāchi, buru kwa nke ndi-mọ ọjọ. N'ihi na ebe ekworo na ịkpa iche iche dị, n'ebe ahụ ka ịgba aghara na ihe ọjọọ nile dị. (Jemes 3:14-16)

Ka a ghara inwe mgbagwoju anya n'ihe James na-ekwu. N'ime ezinụlọ ndị Kraịst, ọnụnọ nke anyaụfụ na ịchọ ọdịmma onwe onye nanị na-arụpụta ọ bụghị nanị na a gaghị amụta nwa, kamakwa na a ga-enwe “mgbagwoju anya na ihe ọjọọ nile”. Ọ bụ nanị ma ọ bụrụ na “amam-ihe ahụ nke si n'elu” na-achịkwa ụmụnna ya ka ahụmahụ ha ga-abụ “juputa n'ebere na ezi nkpụrụ”. (Jemes 3:17)

Ọ na-agbakwụnye: “Ma ọ bu nkpuru nke ezi omume ka ndi nēme udo nāgha n'udo.” (Jemes 3:18)

Ọ̀ pụrụ iju onye ọ bụla anya na Jemes na-enye ndị Kraịst na-agụ akwụkwọ dị ka ndị a nkatọ siri ike maka okwukwe nke na-adịghị arụ ọrụ na nke na-adịghị amị mkpụrụ?

Obi abụọ adịghị ya na mgbe ndị kwere ekwe a na-ekwurịta okwu, ha na-ekwukarị okwu ndị na-akpali mmasị banyere okwukwe ha. Ma olee otú okwukwe ahụ si dị irè kwa ụbọchị?

Okwukwe ha ọ̀ pụrụ, n'onwe ya, ịzọpụta ndụ ha pụọ n'ihe ndị na-akpata ọnwụ mmehie na-akpata bụ́ ndị Jemes kọwara n'ụzọ doro anya ná mmalite nke akwụkwọ ozi ya? (Jemes 1:13-15)

O doro anya na ọ bụghị. Jemes kwuru ya hoo haa, sị: "Ùrù gini ka ọ bara, *umu-nnam*, ma ọ buru na onye ọ bula asi na o nwere okwukwe, ma o nweghi ọlu? òkwukwe ahu puru izọputa ya?" (Jemes 2:14, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche)

Ajụjụ ahụ bụ, "Okwukwe ọ̀ pụrụ ịzọpụta ya?" Jems ji okwu Grik nke na-egosi na a ga-emeghachi omume n'ụzọ na-adịghị mma mee ihe. A pụrụ ịsụgharị ya, "Okwukwe apụghị ịzọpụta ya, ọ̀ pụrụ?" Azịza a na-atụ anya ya bụ: "Ee e!"

Ọ bụ kpọmkwem n'ebe a ka ọtụtụ ndị na-agụ akwụkwọ Jemes na ndị na-akọwa ya hiere ụzọ n'ụzọ dị mwute. Nke mbụ, ha adịghị aghọta isi ihe doro anya Jemes bu n'uche n'ụzọ doro anya mgbe ọ sịrị na okwukwe apụghị ịzọpụta nwoke ahụ ọ na-akọwa.

Ma Jemes adịghị ekwu banyere nzọpụta site n'ọkụ ala mmụọ. *Gịnị mere ọ ga-eji mee otú ahụ?* A mụrụ ya na ndị na-agụ akwụkwọ ya ọzọ (Jemes 1:18), ha nwere okwukwe n'ebube Chineke (Jemes 2:1), ha nwere ihe ùgwù nke ikpe ekpere (Jemes 4:2-3), ọ kpọkwara ha ụmụnna ya ugboro ugboro (Jemes 1:2, 9, 16, 19; 2:1, 5, 14-15; 3:1, 10, 12; 4:11; 5:7, 9-10, 12, 19).

Ọ dịghị ihe ọ bụla mere Jemes ga-eji soro ụmụnna ya kwurịta okwu nzọpụta site na ọkụ ala mmụọ. Ndị na-eche echiche dị iche anaghị aghọta nnwere onwe zuru oke nke onyinye nke ndụ dịka Jemes ghọtara ya (Jemes 1:17-18).[3]

Ma, dị ka anyị hụworo, ọ dị Jemes mkpa ịtụle eziokwu ahụ bụ́ na Okwu Chineke pụrụ ịzọpụta ndị Kraịst na-agụ akwụkwọ ya pụọ n'ihe ndị na-akpata ọnwụ nke mmehie (Jemes 1:15, 21). O kwusikwara ike na *ụdị* nzọpụta a nwere ike ime site na nrubeisi-site n'ọrụ ọma (Jemes 1:22-25). Ya mere, ọ bụ eziokwu a, na eziokwu a *naanị*, ka Jemes na-ezo aka mgbe ọ jụrụ, "Okwukwe enweghị ike ịzọpụta ha, ugbu a ọ nwere ike?"

Ee e, ọ pụghị. Ọ bụrụ na anyị na-ekwu maka ịgbatị ndụ mmadụ site na nsọpụrụ Chineke, anyị na-ekwu maka ihe okwukwe nanị apụghị ịrụzu. Ọ bụrụ na anyị ekwuo, dị ka onye dere Ilu kwuru, banyere ịgbanahụ "ọnyà ọnwụ", anyị na-ekwu maka nsonaazụ nke omume nrubeisi (Ilu 13:14).

Ma okwukwe nke a na-egosipụtaghịzi n'ụzọ ndị dị irè na n'ụzọ nrubeisi bụ okwukwe na-adịghị arụpụta ihe n'ọgbọ agha nke ndụ. N'ezie, a pụrụ ịkọwa okwukwe dị otú ahụ n'onwe ya dị ka nke "nwụrụ anwụ" (Jemes 2:17, 20, 26). Ọ bụ otu ihe ahụ dị ka ịsị na nkwenkwe nke anyị kwụsịrị ime ihe kwekọrọ na ya abụghị ihe ọzọ ma ọ bụghị nkwenkwe nwụrụ anwụ.

*Mmechi*

N'amaokwu mmechi nke mkparịta ụka ya a ma ama banyere okwukwe na ọrụ, Jemes na-ede, sị: "N'ihi na dika aru bu ihe nwuru anwu ma mọ adighi ya, ọbuná otú a okwukwe bu ihe nwuru anwu ma ọlu adighi ya." (Jemes 2:26).

Ọ bụrụ na m na-aga n'okporo ámá otu ụbọchị ma hụ ozu, m pụrụ ikwubi ihe abụọ n'ụzọ dị mfe. Nke mbụ, apụrụ m ikwubi na ahụ ahụ enweghịzi mmụọ na-enye ndụ, nke abụọ, na ahụ a adịbuola ndụ n'ezie. Otu ihe m na-agaghị ekwubi. Agaghị m ekwubi na ozu ahụ adịtụbeghị ndụ ma ọlị.

N'agbanyeghị nke ahụ, n'otu n'ime mgbagwoju anya ndị kasị dị ịrịba ama e nwetụrụla n'Akwụkwọ Nsọ, ọtụtụ ndị ọkà mmụta okpukpe na ndị na-akọwa Akwụkwọ Nsọ ekpebiwo na "okwukwe nwụrụ anwụ" aghaghị ịbụ nke nwụrụ anwụ site na mmalite.

Ma n'ihi gịnị ka o ji kwubie ihe dị otú ahụ? Jemes ji 'okwukwe nwụrụ anwụ' tụnyere ozu nwụrụ anwụ. N'ezie, nke a abụghị ntụnyere na-enweghị isi ma ọ bụ nke na-enweghị nchebara

echiche o mere. Ọ bụrụ na 'okwukwe nwụrụ anwụ' adịtụbeghị ndụ, gịnị ma i jiri ya tụnyere nkume ma ọ bụ ihe ọzọ na-adịghị ndụ?

Ma o doro anya na Jemes ji ihe atụ a mee ihe kpọmkwem n'ihi na o kwesịrị nnọọ ekwesị iji mee ka isi ihe ọ na-ekwu doo anya. Ihe Jems na-echegbu onwe ya bụ banyere Onye Kraịst nke okwukwe ya na-adịkwaghị ike ma na-arụpụta ihe. Ọ na-echegbu onwe ya banyere nwoke ma ọ bụ nwanyị nke okwukwe ya na-adịghịzi arụ ọrụ, dị nnọọ ka ozu nwụrụ anwụ na-adịghịzi arụ ọrụ.

Dị ka Pita onyeozi, Jemes pụrụ ịghọta Onye Kraịst nke na-enweghị àgwà ime mmụọ ndị ọ dị mkpa ka a tụkwasị n'okwukwe ya. (2 Pita 1:5-9) Dịkwa ka Pita, ọ katọrọ ọnọdụ a dị ka nke dị mwute na nke na-awụ akpata oyi n'ahụ.

Nye Pita, onye dị otú ahụ "na-elepụ anya n'ebe dị nso, ọbụna ruo n'ikpu ìsì", o "chefuokwala na a sachawo ya pụọ ná mmehie ndị o mere n'oge gara aga". Nyere James, onye dị otu a—n'agbanyeghị oke olu ha na-ekwu iji dozie nkwenye—nwere okwukwe nke na-adịchaghị mkpa karịa ozu nkịtị.

O doro anya na okwu ndị ahụ siri ike. Ma okwu ndị dị mkpa. Ọ bụ nanị site n'ịkpọ ihe ndị na-adịghị mma n'ụzọ ime mmụọ aha ha—nanị site n'ịhụ ọrịa ime mmụọ dị ka ihe ọ bụ n'ezie—nanị n'ụzọ dị otú a ka a pụrụ imezi ọnọdụ ndị dị otú ahụ.

N'ezie, ọ bụ nanị n'ụzọ dị otú a ka a pụrụ isi zere ha na mbụ. N'ihi na ihe m na-ewere dị ka ihe na-agaghị ekwe omume nye onwe m, m si otú ahụ na-eme ka o sikwuoro m ike izere. Ihe ize ndụ a na-adịghị ahụ anya bụ ihe ize ndụ na-abawanye ụba.

Ya mere, ma ọ dịghị ihe ọzọ Pita chere echiche mgbe o dere okwu ndị a:

> Ya mere, unu ndị m hụrụ n'anya, *ebe unu bu ụzọ mara ihe ndị a*, kpacharanụ anya ka a ghara idufu unu na njehie nke ndị na-eleda iwu anya, unu ewee kwụsị iguzosi ike. (2 Pita 3:17, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche)

"A dọrọ gị aka ná ntị!" ka onyeozi ahụ kwuru. "Kpachara anya maka ihe ize ndụ ndị dị na ya. Ma ọ́ bụghị ya, i nwere ike ịda site n'ịkwụsi ike gị. Ma ọ́ bụghị ya, e nwere ike iduhie gị gaa n'okporo ụzọ ndị na-adịghị mma."

Ma ọzọkwa, ọ dịghị mkpa na ọ ga-adị otú ahụ. Tụlee ọmarịcha ihe ọzọ: "Ma nābanu uba n'amara na ọmuma nke Onye-nwe-ayi, bú Onye-nzọputa-ayi, Jisus Kraist." (2 Pita 3:18).

"Ọ bụ gị ga-ekpebi ihe ị ga-eme," ka onyeozi ahụ kwuru.

# Isi Nke 11

# Iso Jizọs Rie Nri

N'okwu ndị metụrụ ndị mmadụ n'obi n'oge ahụ. n'afọ ndị mbụ nke akụkọ ihe mere eme Ndị Kraịst, Jizọs kpọrọ onwe ya òkù ịbịa rie nri abalị. E dekọrọ okwu na-adọrọ mmasị o kwuru n'akwụkwọ ozi ikpeazụ o degaara ọgbakọ asaa dị n'Eshia, sị: "Lee, eguzo m n'ọnụ ụzọ ma na-akụ aka. Ọ buru na onye ọ bula anu olu nkem, meghe kwa uzọ, Mu onwem gābà nime ya, mu na ya gāri kwa nri-anyasi, ya onwe-ya kwa na Mu" (Mkpughe 3: 20).

Ọ ga-abụ ihe na-ezighi ezi iwere nkwupụta a a ma ama dị ka òkù ozioma dị mfe, ọ bụ ezie na a na-emekarị otú ahụ. N'ebe a, Onyenwe anyị na-agwa otu chọọchị Ndị Kraịst okwu, ma o doro anya na, a na-akpọ onye ọ bụla nọ n'chọọchị ka ọ zaghachi.

N'ezie, nke a bụ chọọchị Leodisia, nke a ma ama maka àgwà ya dị ka nzukọ na-adịghị ọkụ ma ọ bụ oyi. Ọnọdụ ahụ, agbanyeghị, ekwesịghị iju anyị anya. Anyị ahụla ugboro ugboro otu ndị ode akwụkwọ Agba Ọhụrụ siri chee ihu n'eziokwu nke ndị kwere ekwe na-ebi ndụ n'ụzọ na-erughị ụkpụrụ Chineke setịpụrụ ha. Ma site n'iche ihu n'eziokwu a, ha chọrọ ịgbanwe ma ọ bụ igbochi ya.

N'ihi ya, anyị pụrụ ịchọpụta kpọmkwem echiche a n'okwu Onyenwe anyị gwara ọgbakọ Leodisia. Nke a bụ otu ndị kwere ekwe na-anya isi n'ihe onwunwe ha, mana ha dara ogbenye n'ụzọ ime mmụọ (Mkpu 3:17-18). Ọ bụ ezie na ha nwere ọrụ (Mkpu 3:15a), n'àgwà ha, ha dị ka mmiri na-adịghị ọkụ ma ọ bụ oyi. Ha adịghị akpali akpali site n'ikpo ọkụ, ha adịghịkwa ewusi ike ma na-enye ume ọhụrụ site n'oyi na-enye ume ọhụrụ. (Mkpughe 3:15b).

Ihe si na ya pụta bụ na ịdị adị ha n'onwe ya dị ka òtù chọọchị nọ n'ihe ize ndụ. E mere ya dị ka e mere chọọchị nile maka ije ozi dị ka ọnụ nke Chineke, nke ahụ bụ, ịbụ ngwá ọrụ maka ikwusa eziokwu Ya - a pụrụ ịnapụ ya ọrụ a. Dị ka ụfọdụ ntapụ mmiri na-adịghị mma , ha nwere ike ịchọta onwe ha ka ha na - asụfu si n'egbugbere ọnụ nke Onyenwe ha (Mkpu 3:16). Ha nwere ike ịtụfu ùgwù ha dị ka ndị na-ekwuchitere Chineke n'ụwa.

Ma, e nwere ihe ọzọ nwere ike ime. Onyenwe anyị na-agwa ha, sị: "Ka ha ra, bú ndi Mu onwem huru n'anya, anamatu ha nmehie ha n'anya, zí kwa ha ihe site n'inye ha ahuhu: [ma ọ bụ, na-azụ ụmụaka] ya mere, nānu ọku n'obi, chèghari kwa" (Mkpughe 3:19)

Ndị Leodisia bụ ụmụ nnupụisi nke Chineke. Ma ịhụnanya nke Onye Nzọpụta ha sooro ha na " zụlite" ha n'ụzọ nke ikwesị ntụkwasị obi Chineke chọrọ. Ọ kpọrọ ha ka ha chegharịa site na-nmụọ nke adịghị ọkụ ma ọ bụ oyi, ma mee ka mmekọrịta ha na Ya dị ọhụrụ.

N'ihi ya, ọ nọ n'ọnụ ọnụ nke ndụ ha. O ji ịba mba ya gwa ha okwu, jirikwa ịdọ aka ná ntị ya kụọ aka n'ọnụ ụzọ nke obi ha. Ma ọ dị ha n'aka ime ihe. Ọ bụ ha ga-emeghere Ya ụzọ. Ọ bụrụkwa na ha emee otú ahụ, ọ ga-eso ha rie nri, ha ga-esokwa ya rie nri. Ọ bụ ha ga-ekpebi ihe ha ga-eme. Ọ gaghị agbawa ụzọ ahụ.

N'agbanyeghị na nghọta a dị mfe, ọ dị mkpa ka a na-eme ka ọ pụta ìhè mgbe niile. N'ike ọchịchị ya, Chineke nwere ike ime ka onye kwere ekwe ọ bụla n'ụwa soro ya. N'ezie, Chineke nwere ike ime ka mmadụ ọ bụla n'ụwa soro ya. Ọ nwere ike ime ka mmadụ niile n'ebe niile hụ ya n'anya.

Ma olee uru nke ahụ ga-abara Chineke? Olee uru ịhụnanya a manyere mmadụ inwe bara? Ọ̀ bụ na ọ bụghị ihe bú isi dị n'ịhụnanya, ma ọ bụrụ na ọ ga-abụ nke ezigbo ya, bụ na a ghaghị inye ya n'efu? Olee nne ma ọ bụ nna kwesịrị ntụkwasị obi nke na-agaghị achọ ka ụmụ ya hụ ya n'anya? Ma n'otu ụzọ ahụ, ọ dịghị nne ma ọ bụ nna maara ihe nke ga-achọ ịmanye nwa ya ịhụ

ya n'anya ọ bụrụgodị na ọ ga-ekwe omume?. N'ụdị mmekọrịta ọ bụla e nwere - n'etiti nne na nna na nwa ha, n'etiti di na nwunye, ma ọ bụ n'etiti ndị enyi - ịhụnanya bara uru nanị mgbe e ji obi ọcha na ọchịchọ obi gosipụta ya.

Nke a bụ ihe ọzọ nkà mmụta okpukpe dabeere na ọrụ na-aghọtaghị. Ha na-eche n'ụzọ na-ezighị ezi na ha na-akwado nzube Chineke. N'ihi ya, ndị nkụzi nzọpụta dabeere na ọrụ na-ekwu na ezi Onye Kraịst ọ bụla aghaghị ịhụ Chineke n'anya. Mana mgbe ndị mmadụ jụrụ otu nke a ga-esi bụrụ eziokwu ebe ọ bụ na ụmụ mmadụ na-agbanwekarị mmetụta ha azịza ha na-enye bụ otu ihe mgbe niile: Chineke na-emesi ya obi ike.

Ọ bụrụ na nke ahụ bụ eziokwu, mgbe ahụ ịhụnanya ahụ abụzighị nke e ji obi ọcha gosipụta. Ọ bụghịzi n'efu. N'ezie, ọ bụghịzi ezi ịhụnanya. Dị ka agbụrụ Ndị Kraịst n'onwe ya, dị ka agha nke ndụ Ndị Kraịst, ịhụnanya anyị nwere n'ebe Chineke nọ n'echiche usoro nzọpụta dabeere na ọrụ - na-aghọ ihe adịgboroja - naanị ònyìnyò nke ezigbo obi ọcha ọ kwesịrị igosi.

Baịbul adịghị akụzi ụdị ihe a. Mkpughe Akwụkwọ Nsọ anaghị akwado ozizi ọ bụla nke na-ekwu na Ndị Kraịst na-ahụ Chineke n'anya n'onwe ha naanị n'ihi na ha bụ Ndị Kraịst.

Iji mee ka o doo anya, e kenyere anyị ikike nke ịhụ ma Chineke ma ndị mmadụ n'anya mgbe a mụrụ anyị ọzọ. O doro anya na a gụnyere ya n'ime "ihe nile di ndu na nsọpuru-Chineke" nke e nyere anyị mgbe anyị tụkwasịrị Kraịst obi (2 Pita 1:3). Ma ọ bụkwa eziokwu na " obiọma na ịhụnanya ụmụnna" bụ àgwà ndị bú isi e ji mara Ndị Kraịst. A gbara anyị ume ka anyị jiri "oké ịdị uchu" na-ewuli àgwà anyị elu. (2 Pita 1:5). N'ikwu ya n'ụzọ dị mfe, a ghaghị ịzụlite ikike nke ịhụnanya ma mee ka ọ na-eto eto.

Site n'enyemaka Chineke, ọ ga-ekwe omume.

*Iso Kraịst Na-Akpakọrịta*

N'ụzọ doro anya, okwu Jizọs gwara Ndị Kraịst nọ na Leodisia bụ òkù ọ kpọrọ ha ka ha soro ya na-akpakọrịta. N'ebe Ọwụwa Anyanwụ Ụwa n'oge ochie, iso ndị ọzọ na-eri nri bụ ụzọ bú isi e si eso ha akpakọrịta. Ọ bụ ihe bụ isi nke ile ọbịa na akara nnabata onwe onye. N'aka nke ọzọ, mmadụ ịbata n'ebe a na-eri nri n'akpọghị ya òkù bụ ịkparị onye kpọrọ oriri.

Ma echiche nke iso Onye Nzọpụta na-eri nri bụ nanị otu n'ime echiche nke eziokwu Baịbul bara ụba nke anyị na-ezute n'ebe ọzọ. N'ezie, okwu Onyenwe anyị gwara ndị Leodisia gbanyere mkpọrọgwụ n'ozizi O nyere ndị na-eso ụzọ Ya n'ọnụ ụlọ dị n'elu. N'ihi na, n'oge awa ndị ahụ dị oké ọnụ ahịa, nke ikpeazụ ha na Onye Ozizi ha nọkọrọ na tebụl tupu Ya anwụọ, ọ gwara ndị na-eso ụzọ iri na otu ahụ, sị:

> "Onye nwere ihe M'nyere n'iwu, nke nēdebe kwa ha, ọ bu onye ahu nāhum n'anya: onye nāhum n'anya, Nnam gāhu kwa ya n'anya, Mu onwem gāhu kwa ya n'anya, were kwa Onwem gosi ya." (Jọn 14:21).

Ka a mara na ndị na-ege ntị okwu ndị a gụnyere naanị ndị mmadụ a mụrụ ọzọ. Judas Iskariọt apụọlarị (Jọn 13:26-30). Ya mere, a na-akpọ ndị na-eso ụzọ Onyenwe anyị a mụrụ ọzọ ka ha rubere isi. Oku a nwere nkwa na-eso ya. Onye na-eso ụzọ na-erube isi ga-enweta ịhụnanya nke ma Nna ma Ọkpara. "Ọzọkwa, Ọkpara ahụ ga-ekpughere ha onwe ya. O kwuru, sị, 'M ga…egosi ya onwe m.'

Otú ọ dị, ndị na-eso ụzọ ya aghọtaghị okwu ndị a. Echiche ha nile banyere mkpughe nke Mesaịa ahụ dabeere n'atụmanya ha na Ọ ga-apụta n'ihu ọha n'ike na ebube. na mgbagwoju anya,

otu n'ime ha na-ajụ maka nkọwa. "Judas (ọ bughi Iskariot) si Ya, Onye-nwe-ayi, Gini putaworo na I gaje iwere Onwe-gi gosi ayi, ma ọ bughi uwa? " (Jọn 14:22).

Olee ụdị ahụmahụ nke a pụrụ ịbụ? ndị na-eso ụzọ ya nọ na-eche. À ga-eme ka ha hụ ebube Mezaịa ahụ n'ụzọ dị ịtụnanya, n'ụzọ na-enweghị onye ga-ahụ ya?

Azịza Onye Ozizi ha nyere ha na-eme ka ha ghọta ihe ọ na-ekwu. Nke a abụghị ahụmahụ e bu n'obi ikerịta ọnụ, ọbụnadị n'etiti ìgwè ndị ikom a dị n'otu. Kama nke ahụ, ọ bụ ahụmahụ dị ukwuu nke onye ọ bụla n'ime ha ga-enye nzaghachi kwesịrị ekwesị.

Jisus zara, si ya, Ọ buru *na madu* ahum n'anya, *ọ* gēdebe okwum: Nnam gāhu kwa *ya* n'anya, "Ayi gābiakute kwa *ya*, nēme kwa ebe-obibi-Ayi n'ebe *ọ* nọ" (Jọn 14:23, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche).

N'ihi ya, dị nnọọ ka ozi ahụ e zigaara ndị Leodisia si dị, a kpọrọ onye ọ bụla òkù iso na-akpakọrịta. Jisos gwara ndi Leodisia si, "oburu na onye obula nuru... ma meghee" (Mkpughe 3:20). Na iri na otu ahụ, Ọ na-asị, "Ọ bụrụ na *onye ọ bụla* hụrụ m n'anya, *ọ*... "Na n'amaokwu abụọ ahụ Ọ na-ekwu "n'ezie "M ga-abịakwute *ya*."

Ya mere, Onyenwe anyị Jizọs Kraịst na-enye onwe ya nye onye ọ bụla ndị kwere ekwe dị ka Onye ọbịa dị nsọ. Ọ bụrụ na ha ga-aza Ya, ọ bụrụ na ha ga-hụ ya n'anya ma na-erubere ya isi, ọ ga-eme ka obi ha na ndụ ha bụrụ ebe obibi ya nke mere na ahụmịhe ha ga-adị ka iso onye nzọpụta ha rie nri abalị. N'elu "tebụl" ha na-erikọ ihe ọnụ, ha pụrụ ikwurịta okwu n'enweghị ihe mgbochi, ọ pụkwara ime ka ha mara ya. Ọ pụrụ *igosi* ha Onwe ya.

A ghaghị ịghọta na echiche a dị iche na eziokwu dị ebube na Kraịst bi n'ime onye kwere ekwe ọ bụla site na Mụọ Ya (Ndi Rom 8:9-10). A pụghị iji otu echiche dị mfe kọwaa mmekọrịta anyị na Onyenwe anyị ebighị ebi, n'agbanyeghị otú o si maa mma. Mmekọrịta ndị a dị ọtụtụ ma dị omimi. Ee, ahụ anyị bụ ụlọ nsọ Chineke (1 Ndị Kọrint 6:19-20). Ma, ndụ anyị - ma ahụmịhe anyị n'ụwa - nwekwara ike ịghọ ebe obibi Ya: "Anyị ga-eme ka ebe obibi anyị dị n'ebe ọ nọ!"

N'ezie, Pọl onyeozi makwaara eziokwu a nke ọma, o jikwa okwu a na-agaghị echefu echefu kwuo ya:

> Ọ bu n'ihi nka ka m'ji bue ikperèm abua n'ala nye Nna [nke Onyenwe anyị Jizọs Kraịst]... ka O we nye unu,...me ka unu di ike site n'aka Mọ-Ya nābata nime madu ime unu; *ka Kraist we site n'okwukwe-unu bigide nime obi-unu...* (Ndị Efesọs 3:14, 16-17, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche).

Ma Kraịst ọ̀ bụ na o bughị ụzọ biri n'obi ha? O doro anya na o mere otú ahụ. N'agbanyeghị nke ahụ, Pọl pụrụ ịghọta ụdị ahụmịhe pụrụ iche nke Onye Nzọpụta, nke o jikọtara ya na ike ime mmụọ dị n'ime (Ndị Efesọs 3:16) na 'ịbụ onye gbanyere mkpọrọgwụ na onye e mere ka o guzosie ike n'ịhụnanya' (Ndị Efesọs 3:17b).

N'ihi ya, o kpere ekpere maka ahụmahụ ahụ maka ndị kwere ekwe ibe ya. Ahụmahụ ahụ pụrụ iche abụghị nke ha nanị n'ihi na ha bụ Ndị Kraịst. Pọl echeghị na ahụmahụ ime mmụọ a magburu onwe ya ga-esochi nnọọ ntọghata ha.

Onyenwe anyị n'onwe ya ewereghị ihe ọ bụla dị ka ihe dị mkpa n'ịgwa ndị na-eso ụzọ iri na otu ahụ. "*Ọ bụrụ na* onye ọ bụla hụrụ m n'anya,…" ka Onye Nzọpụta ahụ kwuru. Ma e nwere ihe doro anya na-eme ka mmadụ chee echiche, ọzọ: " Onye na-ahụghị m n'anya agaghị edebe okwu m. Okwu ndị a niile unu nụrụ abụghị nke m. Ha bụ nke Nna ahụ, onye zitere m" (Jọn 14:24).

"Ule nke ịhụnanya mmadụ nwere n'ebe m nọ," ka Jizọs kwuru, "bụ nrubeisi nye okwu m. Ma biko cheta na ọ bụrụ na i nupụ isi n'okwu m, ị na-enupụ isi n'okwu nke Nna m."

N'ezie, nke a doro anya dị ka o kwere mee. mkparịta ụka Jizọs na ndị ahụ e mere ka ha dịghachi ọhụrụ nwere, ma ọ ka dị ha mkpa ka a gwa ha na a na-atụ ịhụnanya ha nwere n'ebe Ọ nọ. ọ bụghị site n'okwu ọnụ ha na-ekwu maka ya - kama site n'irube isi n'Okwu Ya n'ezie.

Pita, n'ụzọ pụrụ iche, mere mkpesa dị ukwuu banyere ịhụnanya n'abalị ahụ (Jọn 13:37). Ma tupu mgbede ahụ agwụ, ọ bụghị nanị Pita, kamakwa ndị niile na-eso ụzọ Jizọs, " hapụrụ ya gbalaga." (Matiu 26:56)

Ee e, ịhụnanya abụghị mmeghachi omume na-eme na onwe ya nke onye kwere ekwe ọ bụla na-enye Chineke n'ụzọ na-enweghị mgbagha. Onye Kraịst abụghị ígwè ọrụ na-arụ ọrụ nke a haziri ịhụ Onyenwe anyị n'anya na onye na-enweghị ike ime ihe ọ bụla ma ọ bụghị ihe a haziri ka o mee. Echiche ahụ n'onwe ya bụ ihe na-ekwekọghị n'okike ma na-asọ oyi.

Chineke ekeghị ígwè ọrụ. O kere ụmụ mmadụ n'anụ ahụ́. Mgbe ụmụ mmadụ dara n'ogige Iden na enweghịzi ike ịhụ Onye kere ha n'anya, Chineke gbapụtara ha site n'obe ma nyeghachi onye ọ bụla kwere na Kraịst ikike a. "Ugbu a, Ọ na-akpọ ụmụ Ya ka ha bụrụ ndị na-erube isi n'ụzọ nke ịhụnanya, nke gbadoro ụkwụ n'onyinye nke ndụ nke bụ n'efu n'ezie." Ayi onwe-ayi nāhu n'anya, n'ihi na Ya onwe-ya buru uzọ hu ayi n'anya." (1 Jon 4:19)

Ma Chineke n'onwe ya hụrụ anyị n'anya n'efu na Ọ hụrụ anyị n'anya na-enweghị njedebe n'onwe ya. Ya mere, o doro anya na Ọ chọrọ ka ịhụnanya anyị n'ebe Ya nọ bụrụ ihe na-egosipụta ịhụnanya Ya n'ebe anyị nọ, ma bụrụkwa nke na-apụta n'onwe ya n'ime anyị.

N'ihi nke ahụ, n'ime Akwụkwọ Nsọ Agba Ọhụrụ, Chineke na-achọ ịhụnanya anyị. Ọ na-agba ume ma na-akpọ òkù, Ọ kwere nkwa na Ọ ga-enye anyị ịhụnanya Ya site n'inyere anyị mmekọrịta miri emi na Ya.

Ọ chọrọ ịhụnanya anyị nke ukwuu, nke a bụ eziokwu. Ma ọ gaghị amanye anyị ihụ Ya n'anya:"Lee, eguzo m n'ọnụ ụzọ na-akụ aka."

*Ndụ Na-Anọgide*

O teghị aka Onyenwe anyị gwachara ndị na-eso ụzọ ya okwu ndị ahụ anyị nọ na-atụgharị uche, ya na ha hapụrụ Ụlọ Elu. O kwuru sị "Bilienu, ka ayi si n'ebe a pua." (Jọn 14:31), ya mere nri anyasị ikpeazụ ahụ, na mmekọrịta ime mmụọ ya nile bara ụba, bịara ná njedebe.

Ihe ịrụ ụka adịghị ya na Jizọs na ndị na-eso ụzọ ya eruwo Ugwu Oliv, bụ́ nke ubi vaịn na ubi mkpụrụ osisi jupụtara na ya, mgbe e kwuru okwu ndị ọzọ e dekọrọ:

> "Mu onwem bu ezi osisi vine, Nnam bu kwa onye-ọlu-ubi. Alaka ọ bula nimem nke nādighi-ami nkpuru, O wepu ya: alaka ọ bula nke nāmi nkpuru, O nēme kwa ya ka ọ di ọcha, ka o we mia nkpuru kari...Nọgidenu nimem, Mu onwem kwa nime unu. Dika alaka nāpughi imi nkpuru n'onwe-ya, ọ buru na ọ nọgideghi n'osisi vine; otú a ka unu onwe-*unu* nāpughi, ọ buru na *unu* anọgideghi nimem." (Jọn 15:1-2, 4, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche)

Ọ dịghị ọtụtụ ebe n'ime Akwụkwọ Nsọ Agba Ọhụrụ nke na-eguzogide echiche nzọpụta dabeere na ọrụ nke siri ike dịka nke a. Ọ bụ naanị site n'ịtụgharị ihe ya n'ụzọ jọgburu onwe ya ka e nwere ike, ọbụna n'ụzọ na-adịghị mma, ime ka ọ dabara n'echiche nke nzọpụta dabeere na ọrụ.

Ọzọkwa, ndị nwoke iri na otu ndị a mụrụ ọzọ bụ naanị ndị na-ege ya ntị. Ma Onye-nwe anyị anaghị eche na ndị a ga-amị mkpụrụ n'ezie, kama ọ na-agba ha ume ka ha 'nọgide' n'ime Ya maka ebumnuche ahụ. N'ezie, dịka anyị maara nke ọma, tupu abalị agaa n'ihu, ha niile

akwụsịla ime otú ahụ. Dị ka Matiu si dee (Mat.26:56), “ Mbe ahu ndi nile nēso uzọ-Ya rapuru Ya, ḅalaga.”

Ọ bụ ihe na-adọrọ mmasị na mgbe Jizọs kwuru na mbụ, “Ayi gābiakute kwa ya,.” (Jọn 14:23), O ji okwu Grik metụtara okwu ahụ bụ́ “nọgidesie ike.” N’eziokwu, ọ kwuru, “nēme kwa ebe-obibi-Ayi n'ebe ọ nọ”!

Ya mere, eziokwu ndị a na-ekwu ebe a nwere njikọ chiri anya. Ha bụ n'ezie otu eziokwu.

N'ụlọ elu ahụ, Onyenwe anyị kụziiri ndị ikom a na nrubeisi ime ihe o nyere n'iwu ga-eweta ahụmịhe nke Nna Ya nakwa Ya nwe Ya “ina-anọgidekwa” ná ndụ ha. Ugbu a, na mkpọda nke Olivet, Ọ na-eji ihe dị iche akọwa otu eziokwu ahụ.

Jizọs sịrị na e nwere ike iji mmekọrịta dị n'etiti ndị ikom a na ya dị ka ndị na-eso ụzọ ya tụnyere nke dị n'etiti osisi vaịn na alaka ya. Dịkwa nnọọ ka a na-eme n'ubi vaịn, ebe a pụrụ igbubi alaka ndị dị n'osisi vaịn ha, otú ahụkwa ka a pụrụ isi mee nke a n'ahụmahụ nke ndị na-eso ụzọ Ya. Ọ bụrụ na nke ahụ emee, ịmị mkpụrụ ga-akwụsị. Ya mere, ndị na-eso ụzọ ga-akpachara anya ka ha “nọgide” n'ime Ezi Vine ahụ.

Ọ bụ ezie na a maara nke a nke ọma, ọtụtụ ndị agụwo ihe atụ nke osisi vaịn na alaka ya dị ka a ga - asị na ọ na - akọwa ọnọdụ nzọpụta. Mgbe ahụ, ha ekwubiwo na a pụrụ ịtufu nzọpụta, ebe ọ bụ na a pụrụ ikewapụ alaka ahụ n'ụzọ doro anya n'osisi vaịn ahụ.

Ma nke a bụ nnọọ ihe na-enweghị ihe ndabere ọ bụla n'Oziọma Jọn. Ọ bụ ihe a na-apụghị ikweta ekweta na onye ọ bụla pụrụ iji nlezianya gụọ isiakwụkwọ iri na abụọ mbụ nke akwụkwọ a ma mesịa ruo nkwubi okwu dị otú ahụ. Anyị ahụwọrị ugboro ole, na otu o siri sie ike, onye nkwusa ozioma nke anọ na-akụzi na onyinye nke ndụ ebighị ebi enweghị ike ịla n'iyi, ọ dịghịkwa mkpa ka anyị kwughachi mkparịta ụka ahụ ebe a.

O doro anya ikwu na echiche ahụ bụ na Jọn 15 na-akụzi na ndị mmadụ nwere ike tufuo nzọpụta na-aga megide nkuzi nke Jọn. Echiche ahụ apụghị ịbụ eziokwu.

Ma echiche nzọpụta dabeere na ọrụ banyere ederede a juputara n’ọgbaghara. Ndị nkuzi nzọpụta dabeere na ọrụ na-ahụkarị mmekọrịta nke ‘ịnọgide’ dịka nkọwa nke ọnọdụ nzọpụta.[1] Ma iwu nke ịnọgide na-egosi na ihe megidere nke ahụ - ịghara ịnọgide na-adịgide adịgide - ga-ekwe omume. Mana n'ọtụtụ nkuzi nzọpụta dabeere na ọrụ, a na-ekwu na ọ gaghị ekwe omume maka onye a mụrụ ọzọ. Ya mere, iwu nye Ndị Kraịst ka ha nọgide, na-eme ka ọ bụrụ ihe egwuregwu ọzọ. N’ihi na, dịka ha si kwuo, Onye Kraịst ọ bụla na-eme ya agbanyeghị.

Ọbụna nke ka njọ, Jọn 15:6 na-ekwu banyere alaka e gbuturu a ga-ebipụ ya n'osisi vaịn ahụ, ya akpọnwụọ, e wee kpọọ ya ọkụ. Ma gịnị ka nke a pụrụ ịpụta n'echiche nke nzọpụta dabeere na ọrụ? Ọ bụrụ na mmekọrịta nke osisi vaịn na alaka ya bụ nkọwa nke ọnọdụ nzọpụta, nke ahụ pụtara na onye a na-azọpụtaghị abụghị alaka ọbụla site na mmalite. Mgbe ahụ, olee otú a pụrụ isi kọwaa onye dị otú ahụ dị ka alaka nke bụ́ ndị kpọnwụrụ akpọnwụ? N'ụzọ doro anya, na Jọn 15, nkà mmụta okpukpe nzọpụta dabeere na ọrụ na-eduga ndị na-akwado ya n'ọgba aghara na-enweghị olileanya.

Ọ bụ njehie dị ukwuu—ma nke na-adịghị mkpa —iji lee ihe atụ nke osisi vaịn na alaka ya dịka onyonyo nke nzọpụta. E nweghị ihe ọ bụla n’ederede ahụ na-egosi nke a.

N'ụzọ megidere nke ahụ, ihe odide ahụ na-egosi na ihe atụ ahụ metụtara ịbụ onye na-eso ụzọ. Ya mere, n'okwu ikpeazụ Ya banyere ihe atụ a dị mkpa, Jizọs na-asị: “Nime nka ka anēnye Nnam otuto, ka unu nāmi nkpuru ri nne; *unu gābu kwa ndi nēso uzọm*” (Jọn 15:8, agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche).

Anyị ekwubuola na ịbụ onye na-eso ụzọ bụ n'ụzọ bụ́ isi ahụmahụ nke mmụta ime mmụọ. Ọ bụ usoro nke nwere ike na kwesịrị ịmalite ozugbo a mụsịrị anyị ọzọ, site n'okwukwe, n'ime ezinụlọ nke Chineke. Ma anyị ahụwokwa na, n'adịghị ka anyị na-adịgide adịgide ịbụ onye so

n'ezinụlọ Chineke, ịbụ onye na-eso ụzọ bụ ahụmahụ nke ọ bụ anyị ka ọ dị n'aka ịnọgidesi ike. Site n'enyemaka Chineke, anyị ga-ahụ ya ruo ọgwụgwụ.

Ndị a mụrụ ọzọ, ya bụ—ndị dị ka ndị iri na otu Jisọs na agwa okwu — ga-amụta na ihe nzuzo nke ịbụ onye na-eso ụzọ bụ ịzụlite mmekọrịta nke 'ịnọgide' n'ime Onye Nkuzi ha. Ọ bụrụ na ha mee nke a, Onye-nwe anyị kwadoro na ha ga-ewetara Chineke otuto site n'ịmị mkpụrụ. Ma n'ime ime nke a, ha ga-abụ umu 'akwụkwọ' Ya n'eziokwu, n'ihi na Ya onwe Ya nyere Nna otuto n'ụzọ a.

Ma gịnị ga-eme ma ọ bụrụ na onye na-eso ụzọ Kraịst anaghị anọgide n'ime Kraịst? Nsonaazụ ya gosiri na amaokwu nke isii: 'Ọ buru na onye ọ bula anọgideghi nimem, atupu ya n'èzí dika alaka, ọ kpọnwu kwa; ha we chikọta ha, tubà ha n'ọku, ewe rechapu ha ọku.' (Jọn 15:6).

